
IHE ONYE METERE
MBIGHARI OHURU (NEW EDITION)
IHE ONYE METERE CHINEDUM E. OFOMATA
CHINEDUM E. OFOMATA

# MAKA AKWỤKWỌ A

N'ezie, nwanyi di ya kporọ asị anaghị esita ya n'ofe dị ụtọ. Maka na a naghị eji ime amara were na-emeta onye ihe ọjọọ.

Mana nwatakịrị na-ebe akwa na e nyeghị ya akịịlu, nwanne m, ọ hụkwara ka ihu dị ndị tara ya? Ọchọ ihe ukwu ga-ahụrịrị agba enyi. Maka na ọ bụ isi kotere ebu ka ebu ga-agba. Ọ bụ onye ahụbeghị ihe, na-abụ ọ na-eme ihe ọ na-ajụ chi ya ọ ga-eme gịnị? Mana gị bụ onye ọjọọ na-abọrọ chi gị ntọọ i chetakwara na ọ bụrụ na ama ehi agbaghị n'izu, ọ gbaa n'ọnwa. Nwọhịa, Okechi na Ọnwụha kpara nkata were gbuo ozu mana mmiri fadore ha n'eze. Ọ bụghị naanị na ozu ha gburu kpara ha eze ma hịọchapụ ha ọnụ, kama ha ghọtakwụazịrị n'ikpeazụ na ọrịa gburu ozu na-eso ozu o gburu ala mmụọ.

Tụtụrụ akwụkwọ a gụọ ka ị ghọta n'ezie na onye ihe ọjọọ anaghị ama onye nwụrụ akwa ya na-ahịọ. Mana ọ na-abụ aka kpara ekperima, ujọ ezuo ya ahụ. Ọ ghọta ozigbo na ihe na-eku ume na-anwụ anwụ. Maka na ọ bụ onye isiike ka ụtarị na-ezo ka mmiri n'ahụ. Mee elu, mee ala, ọ bụ ihe onye metere ka ọ ga-ejirịrị isi ya were buru.

ISBN 978 [illegible]

FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD.
*(Publishers of Ideal Text Books)*
84 Obiagu Road,
P.O. Box 729, Enugu
Enugu State, Nigeria
Phone: 08033393296
Email: formatpublishers30@g-mail.com

# IHE ONYE METERE

**Chinedum .E. Ofomata**

**FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD**
(*Publishers of Ideal Textbooks*)
84 Obiagu Road
P. 0. Box 729
Enugu. Enugu State, Nigeria
Phone: 08033393296

E-mail: formatpublishers30@gmail.com
*Published By:*
**FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD**
***(Publishers of Ideal Textbooks)***
84 Obiagu Road
P.O.Box 729
Enugu, Enugu State, Nigeria
Phone: 08033393296

**Branch Office**
6 Orogbo Street
Behind Nitel/Nipost
Off Zik Avenue
Anambra State.

Mbipụta Nke Mbụ - **1996**
Ndeghari̩ Na Mbighari̩ Nke Abụọ - **2003**
Ndeghari̩ Na Mbighari̩ Nke Atọ - **2013**
Ndeghari̩ na Mbighari̩ Ọhụrụ - **2019**

© **Chinedum E. Ofomata**

**ISBN: 978 - 32531 - 7 – 4**

O nweghị Onye, Ndị maọbụ Ụlọọrụ ọbụla nwere ike ịkọpịrị n'ụdị n'ụdị ọbụla maọbụ bipụta

ihe ọbụla dị n’ime akwụkwọ a na-ebughị ụzọ nata onye dere ya maọbụ ụlọọrụ bipụtara ya ikike zuru oke.

## NDỊNAYA

**Isi** **Ihuakwụkwọ**


Okwu Mmalite - - - - 5

**Isi Nke Mbụ**
Egbe Gara Mba Ewerela Isi
Ya Tụọ Mgbere - - - - 7

**Isi Nke Abụọ:**
Anwụ Kee A Hụ Ihe Nte Gburu - 24
**Isi Nke Atọ:**
Isi Kote Ebu O Gbakachaa Ya- 50

**Isi Nke Anọ:**
Ihe Onye Metere O Were
Isi Ya Buru - - - - - 78

**Isi Nke Ise:**

Ogbu Mma Na-Ala Na Mma - - 103

**Isi Nke Isii:**
Ụra Tọwa Ụtọ,E Kwowe Ya Ekwo - 136
**Isi Nke Asaa:**
Ihe Dike Hụrụ N'Ọgbọ Ọgụ - - 156
**Isi Nke Asatọ:**
Ndụ Bụrụ Akwa Ọkụkọ Onye Iro
Etiwaa Ya - - - - - 175

**Isi Nke Itoolu:**
Ihe E Mere Atụrụ Di Ebulu Iwe - 186
Okwu Mmechi - - - -

# OKWU MMALITE

Ụbọchị onye ihe ọjọọ mere ihe ọma, obi anaghị adị ya mma. Mana, ụbọchị ọbụla o meghị ihe ọjọọ, ụra anaghị eburu ya maka na arụsị na-eri asaa erighị asaa ọ naghị ezu ike. Naanị echiche onye ihe ọjọọ mgbe niile bụ ime mpụ, ịrụ ala na ipu eze elu. Mkpa ya kwa chi efola bụ ịkpa arụ.

Mana, gị bụ onye arụrụala, i chetakwara na ọ bụ ihe onye na-asara ka e ji akwụ ya ụgwọ. Ihe onye na-eme na-ezu ya ahụ. Ihe onye na-eche maka ya na-abịara ya. N'ihi na ọ bụ isi ọbụla kotere ebu ka ebu ga-agbakacha.

Onye omekome, I chere na ị gbalaala? Mbanụ! A ṅụrịzịla n'ihi na isi mkpi ka dị n'akpa mkppi. Ị gbalaa, kedụkwanụ maka ụmụ gị? Ụmụ gị wụfee ya, ma ụmụnna gị ma ndị gbara gị okirikiri atọla! Maka na eze anwụrụ anaghị ekwe nsachapụ.

Mana, chetakwa na ihe ọjọọ ọbụla na-anata ụgwọ ya. I kpowe, i kpochaghị, ụmụ gị ewere eze kpere ekwere. Ma ụmụnna gị, ma ndị gbara gị okirikiri, na-eji anya ha ahụ ntị ha. N'ihi nke a, onye hụkwara ihe ọjọọ maọbụ hụ onye na-eme ya, kwupụrụ ala maka na onye hụrụ agadi nwaanyị ebe ọ na-eri akpala ọkụkọ were hapụ ịchụpụ ya marakwa na o bute ụkwara o zuo ọha niile ọnụ.

N'ezie, ogbu mma na-ala na mma. Ọgba egbe na-alakwanụ n'egbe. Ọgwọ ọgwụ na-alakwanụ n'ọgwụ n'ihi na ọ bụ ihe onye na-eri ka a na-enye ya. Onye nwee ntị ọ nụrụ. Onye kpọchikwaanụ ntị, ọ ghọta n'ikpeazụ na ọ bụ ihe onye ọbụla metere o were isi ya buru n'ihi na ọ bụghị onye buru ibu, mkpumkpu apụọ onye ọzọ n'azụ.

**CHINEDUM E. OFOMATA**

## Isi Nke Mbụ

# EGBE GARA MBA EWERELA ISI YA TỤỌ MGBERE

“Anyị lekwuo anya Ọhahụrụ mkpụrụ ụbọchị abụọ anyị ahụghị ya, ihe dị abụọ otu emee. Atụrụ sị na ọ maghị agba egwu mana a kụrụ egwu bata na be ya, ọ bụrụ na ọ maghị agba, o kwewe n’isi. Maka nwata gbere igbe bịa sọọ m ọkụ, aga m egbekwara igbe ga sọgwara ya ọkụ ahụ. Ndị be anyị kwuru okwu sị na ọ bụ mmadụ ka e ji aka. O nweghị onye ọ ga-abụ a napụ ya nke ya, obi ana-atọ ya ka ụzịza. Ọhahụrụ nwụọ anwụọ, mgbe ọbụla anyị kpọrọ unu oku, unu azaa anyị ya. Ọ bụrụkwanụ na ọ nọ ndụ, unu ekwekwala ka mmiri baa ya ntị tupu o ruo anyị aka n’ihi na nwoke ahụ so na ndị dimkpa Ụmụnka ji anya isi. Kemgbe mkpụrụ ụbọchị abụọ gara aga ọ bịachara ahịa n’Afọ Alaukwu, ọ dịbeghị onye hụrụ ya anya rukwaa taa. Nwunye ya na ụmụ ya nọ n’ụlọ na-ebegbu onwe ha n’akwa. Ọ bụ Nze Iyiegbu bụ eze na-achị obodo anyị bụ

Ụmụnka zitere anyị n'ihi na ọ bụ a chọwa isi ọchụ a gaa n'ụzụ.

Oge ndị dimkpa ise ndị ahụ gwachara Eze Ụzọemezie bụ eze ndị Alaukwu ihe ndị ahụ kpatara ha jiri bịawa, okwu ahụ riri ya ọnụ n'ihi na ọ maghị otu o ga-esi gbuo ya bụ agwọ dara kparakpata. Eze Ụzọemezie mechaa rịọ ha ka ha lawagodu ma bịaghachi nwanne echi ya ka ya were nwayọọ chee ma mara otu a ga-esi mee ya bụ ihe, maka na ọ bụrụ na a kwụrụ ọtọ tụwa nwaanyị ime, ọ mụghị onye ara ọ mụọ onye nzuzu. Ọ gwara ha ka ha rịọrọ ya Nze Iyiegbu arịrịọ ka o nwetụ ndidi ka ya bụ Eze Ụzọemezie were anya okenye ji achọ ihe danyere na mmiri were chọọ ya bụ ihe iji were mara ebe ya bụ agwọ uchichi dowere isi. O kwere ha nkwa ma kwesie ha ike na ọ gaghị alakpu rahụ ma ọ bụrụ na ọ chọtaghị ebe ya bụ mmiri siri baa n'opi ụgbọgịrị.

Ka Eze Ụzọemezie kwuchara okwu, otu dimkpa n'ime ndị dimkpa ise ahụ a na-akpọ

Udenkwo, nwanne Ọhahụrụ, kulie were aha mmadụ anọ ndị ọzọ ya na ha so were bịa ya bụ ije were kelee Eze Ụzọemezie, were sị ya na ha kelere ya otu o siri nabata ha na kwa otu o siri gosi mwute maka nwanne ha nwoke ha na-achọ. Na ọ ga-atọ ya ụtọ nnukwu ma bụrụkwa ihe aṅụrị pụrụ iche n'etiti obodo Ụmụnka ma ọ bụrụ na ha bịa nwanne echi a kpọnye ha nwanne ha na ndụ maọbụ gosi ha ebe ha ga-eje kpọrọ ya. Udenkwọ gakwara n'ihu rụtụ aka ma kwuokwa na "Ihe anyị ji agba akpọku Alaukwu banyere ọchịchọ a anyị na-achọ Ọhanyere bụ na ndị be anyị ha na ya yịịrị gaa ahịa kwuru na ha hụrụ ya ka ọ na-eresị ndị mmadụ ụtaba na mgbede ụbọchị ahụ. Mgbe ha kpọrọ ya ka ha laa, ọ sị ha lawa na ndị ahịa nọ nnukwu n'ọdụahịa ya. Na ọ bụrụ na o resichaa ha ihe ka o were nwayọọ lọtawa. Kemgbe ụbọchị ahụ ruo taa, ọ dịghị onye hụrụ ya anya. Ọ bụrụ na e mechaa n'ikpeazụ, e were chọpụta na ọ bụ mmadụ gburu ya, kama mụ gaghị abọ ọbọ ya, ihe riri isi nwanne m rikwuo nke m." Udenkwo

kwuchaa okwu, ha kelee Eze Ụzọemezie, nyarakwa egbe ha na mma ha tucha n'ukwu ha, laghachi Ụmụnka.

Ka ha laruru be ha, ha kọọrọ Nze Iyiegbu otu ha siri jee. Nze Iyiegbu kelere ha nke ọma ma kwekwa ha n'aka n'otu n'otu maka otu ha siri gaa ya bụ ije. O mechaa kpọkuo ndị obodo ya were rịọ ha ka ha jide obi ha aka tutu ha amara ihe bụ uche Eze Ụzọemezie na ndị obodo ya banyere okwu Ọhahụrụ a, maka na ọkụkọ sị na ọ na-atụgbu atụgbu tupu o loo. Ha kwetara n'ihe o kwuru, ha niile gbasaa were na-eche nwanne echi bụ ụbọchị nta ka ha gaa chụọ n'owere nchi.

A chọwa mmaekwu, a gbaa ama ihe e riri. Ọhahụrụ na Udenkwo bụ naanị mmadụ abụọ nne na nna ha mụtara tupu ha anwụọ. Ha abụọ alụchaala nwaanyị mụtachaa ụmụaka. Udenkwo bụ diọkpara. Ọ bụ onye ọrụ ugbo mana Ọhahụrụ n'onwe ya bụ onye mgbereahịa. Ọ na-azụ ahịa ụtaba ma na-arụkwa ọrụ mgbe ọbụla ohere ya dapụtara.

Ọhahụrụ na-eji ọkpa esi Ụmụnka aga Ọnịcha ịzụta ụtaba ọ na-ere ere. Ọ lọta, ọ na-ebu ya aga nnukwu ahịa obodo ndị gbara ha gburugburu iresị ya ndị mmadụ. A maara ya nke ọma n'obodo ndị ahụ niile ọ na-aga ahịa dị ka 'Nwoke ụtaba'.

Alaukwu so n'obodo ndị ahụ gbara Ụmụnka gburugburu. Afọ bụ nnukwu ahịa ndị Alaukwu na-azụ. O nweghị Afọ ọbụla Ọhahụrụ na-akọ ụkọ n'Alaukwu. Ọ na-ga eresị ha ụtaba maka na Alaukwu so n'obodo na-agba ya aka ahịa, n'ihi na ndị na-akpọ ụtaba n'obodo ahụ ka ndị anaghị akpọ ya. O rechaa ahịa n'Afọ Alaukwu lawa, ego ọ na-ebu were na-ala na aka nke o dowere n'ụlọ.

Otu ụbọchị ndị dimkpa atọ na-akpụrụ nnu n'ala Alaukwu were kpaa nkata otu ha ga-esi meminaa Ọhahụrụ were nakọrọchaa ya ego niile ọ zụtara n'ahịa ụbọchị ahụ. Aha ndị dimkpa atọ ndị ahụ bụ Nwọhịa, Okechi na Ọnwụha. Onye bụ onye isi ha bụ Nwọhịa. A maara Nwọhịa n'obodo Alaukwu niile dị ka

onye ihe ọjọọ na-eto afọ. Ọ na-enye nsi na aja, na-akọ ndị mmadụ ọgwụ otu o siri masị ya. Ndị o ji ọgwụ dulaa mmụọ kariri aja dị n’ala.

Alaukwu maara ya dị ka onye ji ịkọ ọgwụ ekele mmadụ ekele, nke mere na a na-asọ ya asọ ebe ọbụla ọ batara. Ọ lụrụ nwaanyị mana o jighị nwa. Naanị otu nwa nwunye ya mụtaara ya ka ọ gara n’elu akwa ebe nwunye ya nyibere ya, kuru ya ga were gwọọ ọgwụ mmadụ agaghị eji gbuo ya. Ka nwunye ya chọpụtara ihe o mere were chọọ ka o tiere ala Alaukwu mkpu, ọ sị nwunye ya na ọ bụrụ na o bee pịm, o were mmaoge ya bepụ ya isi. Nwunye ya were ọsọ hichaa anya mmiri ya, tụtụkọọ ngwongwo ya niile, gbalaa na be nne ya na nna ya.

Okechi na Ọnwụha bụkwa ndị arụrụala mana nke ha anaghị ede ude ka nke Nwọhịa. Ọ dịghịkwa ụzọ o siri gbara ha na Nwọhịa na-ime ihe ọjọọ. Kama, ha bụ ndị enyi Nwọhịa. Ha alụchaala nwaanyị, mụtachaa ụmụ. Ọ bụ

Nwọhịa kpọrọ ha na be ya were tụpụtara ha aro na ọ ga-adị mma ka ha gaa n'ụzọ ịkpa ahụ Ọhahụrụ si ala chebiri ya, ọ gafeta ka ha napụtachaa ya ego niile ahụ ọ na-ebu n'ukwu ma werekwa mma kpọlaa ya mmụọ. Ka Nwọhịa gwachara ha ihe a, ha kwetara n'ihe o kwuru n'ihi na akịdị abụghịziri ngwere ihe nta mbụ.

O ruo ụbọchị Afọ ha kwetara na ha ga-arụ ala ahụ, Okechi na Ọnwụha were mmaoge ha gawa na nke Nwọhịa. Ka ndị si obodo ọzọ bịa ahịa n'Afọ Alaukwu malitere lawa, ha yịkọrọ gaa n'etiti ịkpa ga chebiri Ọhahụrụ n'ụzọ ndị Ụmụnka si ala be ha. Mana naanị chi zọrọ Ọhahụrụ ụbọchị ahụ bụ na ya ụmụnwoke ndị be ha bịara ahịa ụbọchị ahụ yịkọọrọ lawa n'igwe. Ọ lara ọsọ ọsọ ụbochị ahụ n'ihi na ọ sị na ahịa adịghị ụbọchị ahụ n'ihi na ndị ahịa ya abịaghị ahịa nnukwu. Oge Nwọhịa na ndị otu ya hụrụ Ọhahụrụ n'etiti ndị dimkpa tucha mma n'ukwu, ha maa ọsụ, iwe na ọnụma jupụta ha obi. Nwọhịa were sị Okechi na Ọnwụha pụta ka

ha lawa n'ihi na ụkwa ha chọrọ ịpị na mkpụrụ adịghị ya. Na chi anụọhịa ahụ bụ Ọhahụrụ azọọla ya ụbọchị ahụ. Mama anụ laa taa, echi bụ nta. Ha werekwa mma ha lawa, wee cherekwa Afọ ọzọ.

Ka ahịa Afọ ọzọ ruru, Ọhahụrụ burukwa abọ ahịa ya gawakwa ahịa n'Alaukwu maka na ọ bụ ebe nwata na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ ka ọ na-apụ ọrịrị kwa mgbe. O rere ahịa nnukwu ụbochị ahụ, mana ọ maghị na ọ bụ ahịa ikpeazụ ka ọ na-ere n'ihi na ya bụ ọkụkọ na-akpaghari̇, mana e kechaala anụ ya. Ndị ahịa ya juru na nke ya ụbọchị ahụ na-azụ ya ụtaba ka a na-anwụ anwụ. Mgbe ndị be ha gwara ya ka ha lawa, ọ sịrị ha buru ụzọ gawa na ọ na-abịa. Na ọ bụrụ na o resịchaa ndị mmadụ ahịa, o were ọsọ chụkwutewe ha n'ụzọ. Ọnwụ ga-egbu nwa nkịta anaghị ekwe ya anụ isi nsi.

Ndị be ha bịara ahịa buru ihe ha lawa were sị ya mgbe o jiri mechazie ọ lọtawa n'ihi na ha agaghị echetanwu ya. Ka ndị ahịa bidoro

lawa, Nwọhịa, Okechi na Ọnwụha gaghachiri ebe ahụ ha nọ chere Ọhahụrụ n'izu gara aga zoo, na-eche ya ka ọ lafeta, ka ha were obejiri ha jicha were dulaa ya mmụọ. Ozigbo Ọhahụrụ rechara ahịa ya, o were ije ọsọ ọsọ lawa ka ọ mara ma ọ ga-achụkwuta ndị be ha n'ụzọ. Ọ bụrụgodu na o nwetaghị ha n'ụzọ, ka ọ mara ma ọ ga-eru be ha bụ Ụmụnka tupu ochịchịrị enweghị atụ agbachibido ya n'ụzọ n'ihi na tupu o si Alaukwu kulie lawa, chi ejiwela. Chi nte chọọ igbu ya, ọ kpapụtara ya ọkụkọ n'etiti ehihie ka ọ tụrịa. Ọhahụrụ na-agasi ike ka ọ lakwuru ndị be ha, mana ọ maghị na ọ bụ ọsọ ka o ji were na-achụkwu ọnwụ ya. Ọ gakatara, rutewe nso akụkụ ebe ahụ Nwọhịa na ndị otu ya nọ na-eche ya, egwu tụwa ya, ọ mịpụta obejiri ya jide n'aka wee chebiri ihe ọbụla ga-ada kparakpata ka o gbuo ya kparakpata.

Ihe kpatara ndị dimkpa mgbe ahụ ji eji mma aga ebe ọbụla ha chọrọ ịga bụ maka na ọnwụ jupụtara ebe niile oge ahụ. Ndị ajọ mmadụ na-achọ isi ha ga-egbuta mgbe ahụ jupụtara

ọhịa na ụzọ, tinyekwara anụọhịa dị iche iche obi ha jọrọ njọ na-achọ onye ha ga-akpụrụ na ndụ. Ọ bụrụ na mmadụ ibe gị echeghị gị n'ụzọ, anụọhịa echebido gị. Onye ọbụla na-eche onwe ya nche oge niile maka na ọ bụrụ na ị rachaghị ọnụ gị, ụgụrụ anara gị ya rachaa. Ụmụaka na ụmụnwaanyị anaghịkwa aga ebe tere aka naanị ha ma ọ bụrụ na ọ dịghị dimkpa so ha. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara ha ji ayị n'igwe aga ebe ọbụla ha na-aga, maọbụ ayị n'igwe ala ebe ọbụla ha gara.

Chi jibidoro Nwọhịa ha ebe ha na-eche Ọhahụrụ n'ime ọhịa. Ha nọkata chewe ma Ọhahụrụ ọ laferela tupu ha abịawa. Mana ha sị mba na ọ ga-anọ n'ụzọ n'ihi na ha hụrụ ya n'ahịa ka ọ na-eresị ndị mmadụ ihe tupu ha bịawa ebe ahụ ha nọ. Mgbe ha na-atụgharị ihe ndị a n'uche ha ka Nwọhịa letịpụrụ anya were hụ Ọhahụrụ ka o bu abọ ụtaba ya n'isi na mma o ji n'aka, zọrọ ije na-abịa. Nwọhịa kpọọ Okechi na Ọnwụha wee gosi ha Ọhahụrụ ebe ọ na-abịa ka mmọnwụ chi jibidoro. Ha kwee n'isi, dị njikere chere ya

ka o ruo nso tupu ha emee uche ha. Ha makpuruchaa n'ala na-eche ya. Ọhahụrụ ruo nso ebe ahụ ha nọ, ha gbachị ya nkịtị ọ gafetụ ha nwantakịrị. Ozigbo Ọhahụrụ gafetụrụ ha nwantakịrị, ha were nwayọọ si n'ime ọhịa ebe ha nọ gopụtachaa, si n'azụ gụchie ya, abọ ahịa o bu n'isi dapụ daa n'ala, isi ụtaba ndị o refọrọ ụbọchị ahụ wụsarachaa iche n'ala, abọ ya tọgbọrọ iche. O tie mkpu, gbaa nịka nịka ka ọ zọpụta onwe ya n'aka ndị ji ya mana mberede nyịrị dike. O were obejiri ahụ o ji n'aka gbuo ha maka na ọ bụ mberede ka e ji ama dike, mana ọ dịghị onye o gbutere ya nke ọma. Naanị Okechi ka o ji ya merụọ ahụ n'ihu. Ha buru Ọhahụrụ tụọ n'ala, jide ya ka ha napụta ya mma ahụ tupu ha ewere mee ya ihe ha ga-eme ya, maka na ha maara na ha hapụ ya, o were mma ahụ sụọ ha àtà.

Mgbe ha na-eme ihe ndị ahụ, chi ejiela. Ọ dịghịzi onye na-aga n'ụzọ. Ha mechaa napụta ya mma ahụ mana tupu mma ahụ esi n'aka Ọhahụrụ pụta, ọ dị ka e siri n'ọkụ. Ozigbo ha napụrụ Ọhahụrụ obejiri ya ahụ, Ọhahụrụ bido

tiwe mkpu akwa n'etiti ịkpa ebe ahụ n'ihi na a napụla akpị ihe o ji eme ire. O tie mkpu akwa, tie mkpu akwa, kpọkuo nwanne ya nwoke bụ Udenkwọ, kpọkuo ndị be ha bụ ndị Ụmụnka, na-asị ha na aka akparala ya n'Alaukwu. Na aka akparala dike!! Ọkụkọ sị na ihe ọ na-etiri mkpu abụghị ka ihe ji ya hapụ ya na ọ bụ ka ọha nụrụ olu ya.

Ha maburu ya baa n'ime ọhịa tọgbọ ya ebe ahụ. Ọhahụrụ waliri ka ọ gbaa ọsọ, Nwọhịa were mma gbuwaa ya azụ. Ọhahụrụ daa n'ala gwoo, bee akwa mwute, kpọkuokwa nwanne ya nwoke bụ Udenkwọ ọzọ, kpọkuo nwunye ya na ụmụ ya, were sị ha na dike alaala mmụọ, na isi ya atọla ka ọ bịara ahịa Afọ Alaukwu. Akwa niile ya bụ ọkụkọ na-ebe bụ akwa o ji ala mmụọ. Okechi were mma nke ya tụkwasa ya n'azụ pem ebe ahụ ọ na-atụ akpị ọnwụ. O tie mkpu ọzọ na-asị na ọ maghị na ọ bụ otu ahụ ka ọ ga-esi were laa mmụọ. Ọnwụ arịrị!! Ọnwụ obi mgbọwa!!! Ọnwụ mwute!!!! Ọnwụha mịrị mma nke ya bepụ ya isi n'ala ebe ahụ ọ tọgbọ na-ebe akwa ụla. Isi

ya dachapụ, tọgbọrọ otu akụkụ na-agbaghari okirikiri ka azụ mmiri tabidoro. Ka ha hụrụ na dike anwụruola ala, ha were obejiri ha hichachaa n'ala mịnyekwa ha n'ọbọ. Ha tinye aka n'ukwu Ọhahụrụ, wepụtachaa ego niile o retara ụbọchị ahụ, kee. Ha bụkọtachaa isi ụtaba niile ahụ o refọrọ ụbọchị ahụ kekwuo, were abọ ya tufuo n'ime ọhịa. Mana tupu ha alawa, ha buuru ozu Ọhahụrụ na isi ya ga tụnye na mmiri na-ekwo ekwo dị n'agbata ndị Alaukwu na Ụmụnka. Ọ bụ mmiri ahụ ka e jiri mara okeala ndị Alaukwu na Ụmụnka. Ha rụchaa ala ahụ lawa na be ha n'otu n'otu.

Igbo kwuru okwu sị na ụkwụ ọbụla na-aga warawara, anya na-aga warawara na-ahụ ya. Nwọhịa, Okechi na onwụha amaghị na mgbe ahụ Ọhahụrụ na-eti mkpu akwa, na o nwere otu nwoke onye Alaukwu a na-akpọ Nzeka nụrụ olu akwa ya, o zoo were na-ele ha ebe ha ji Ọhahụrụ atụle onye obejiri ya kacha atụ nkọ; ebe ha na-eme onye gbuo, ọ pụta ibe ya egbuo.

Chi jibidoro Nzeka ebe ọ gara ọrụ n'ugbo ya. Ka o ji anyasị ahụ alọta ka ọ nụrụ olu mkpu akwa dimkpa na-eti n'ọmaagụ ahụ, o were nwayọọ kee nkwụcha n'ime ịkpa ebe ahụ ka o were mara ihe kpatara ede jiri bee nwụrịm n'ọkwa. Ọ bụ ebe ahụ ọ makpu na-enyo ka ọ nọ hụ dimkpa atọ ebe ha ji mma egbuka Ọhahụrụ ka a na-egbuka mbaraka osisi. Nzeka nọrọ ebe ahụ ọ makpu kpọọ nkụ. Akpataoyi jupụta ya ahụ niile. Ọ nọkata dụọ n'ubu, anyammiri si ya n'anya tụpụ pọm pọm. O hichaa anya ya were nwayọọ gbụpụ asọ maka ihe arụ ụmụ mmadụ Chukwu kere eke na-eme n'elu ụwa a. O werekwa nwayọọ si ebe ahụ ọ makpu nyoo nke ọma ka ọ mara ma o nwere otu ọ ga-esi mara ndị na-arụ ala ahụ. Ike ụwa a gwụrụ ya mgbe o jisiri ike nyochata mmadụ abụọ ọ maara nke ọma na be ha n'ime mmadụ atọ ahụ n'abalị ahụ. Mmadụ abụọ ọ hụpeere ihe ahụ bụ Nwọhịa na Okechi. Ọ hụrụ onye nke atọ so ha mana ọ maghị na ọ bụ Ọnwụha. Ọ maghịkwa onye ahụ ha ji mma were dulaa mmụọ. Naanị akwa o bere mgbe ha ji mma akụ ya ekwe

n’azụ ka ọ nụrụ. Egwu ekweghị ya gawa ebe ahụ ha zuru ka ha ha eri udele, were tọtụzịa ngụga, maka na ọ maara nke ọma na ọ tụọ ọkpa ebe ahụ, ihe riri nri arachakwuo ofe na-atụfụghị oge ọbụla. Nzeka were nwayọọ kụọ paa n’ime ọhịa ebe ahụ o zoro, na-eche ka ha lawa tupu ọ pụta.

Mgbe Nwọhịa na ndị otu ya mechara uche ha, ha chọrọ ụzọ ha lawa na be ha n’otu n’otu. Ka ha na-eme ihe ahụ niile, ọ dịghị onye nụrụ olu ha. Ha ekwughịkwa pịm wee mechakwaa ihe ha bu n’uche were bịawa. Naanị n’iku ka ha na-egburu onwe ha tutu ha mechaa ihe ha chọrọ ime maka na Igbo kwuru okwu sị na ọ bụ otu mkpụrụ aka ka ọyị ji agwa ọyị ibe ya okwu. Mgbe Nzeka hụrụ na ha agateela aka, o were nwayọọ si ebe ahụ ọ nọ piopụta n’ụzọ, ụjọ jide ya n’ihi na ọ maghị ma agwọ tagburu Ọhahụrụ o nwere ike ịjụ ya ọdụ n’ụzọ. Kama otu anya adịla, a ga-elerịrị ya ele. O were nwayọọ lawa na be be ya. Ọ na-aga, ọ na-eke nkwụcha n’ihi na ọ maghị ebe agwọ anyasị

dowere isi ya. Ka ọ batara na be ya, ihe ọ hụrụ enyeghị ya ọnụ okwu. Nri ekweghị ya eri. Ọ kpọọ nwunye ya tụtụrụ ihe niile ọ hụrụ n'ịkpa ọ gara kọọrọ ya, nwunye ya tipụrụ ala mkpu were sị onye metara nke o metara kpochaa, n'ihi na ọ dịghị nke ya na di ya na ụmụ ha ma. O mechaa gwa di ya ka ọ ghara ịkọtara ya onye ọbụla n'ihi na oge eteghị aka, ama akịdị ga-agbarịrị na nsị.

O mechaghị mkpụrụ ụbọchị abụọ, ndị Ụmụnka chọrọ Ọhahụrụ bịa Alaukwu. Ọ bụ Nze Iyiegbu bụ eze Ụmụnka zipụrụ dimkpa anọ ahụ ji azụ eku ume tinyekwara nwanne Ọhahụrụ bụ Udenkwo ka ha jee jụta Eze Ụzọemezie ihe kpatara ya bụ mmiri erughị eru jiri zoo maka a chọọ nwamkpi a hụghị ya, a hụ onye nwe ya. Kemgbe ahụ Ụmụnka ahụghị Ọhahụrụ, be ha niile na-ada ghara ghara. O nweghịzi onye na-ekwe arahụ ụra n'ihi na ọ bụ ihe dịrị ọkụkọ mma, ọ tụchawa onwe ya. Ihe kpatara o ji ewute ha nke ukwu bụ maka na Ọhahụrụ so na dimkpa ha ji eje mba. Ọ dịghị ihe e ji dimkpa eme a na-achọ

ya achọ na ya. Ị chọọ ya n'ihe e ji ike eme, ị hụ ya. Ị kpọọ ya oku n'ihe ọbụla e ji uche eme, ọ zaa gị. Ị jụọkwanụ ase ya n'ihe gbasara mma, ụmunwaanyị akọwaara gị na ihe kpatara ọchịchọ ahụ a na-achọ ya ji echu ha ụra bụ maka na mma ọ mara na-ese okwu. Ọhahụrụ machara mma, mma gwụ. Ọ bụ ụdịrị mma ahụ ọ mara kpatara nne ya jiri gụọ ya **'Ọhasoromhụrụ'**. Ọ bụ ihe ndị a ka ọ na-abụ Udenkwọ chetachaa, obi a na-achọ ịgbọwa ya ibegiri abụọ. Ọ bụkwa ya kpatara o jiri si Eze Ụzọemezie na kama ọ gaghị ahụ nwanne ya, kama ihe riri isi ya bịakwụọ kpụrụ ya bụ Udenkwo na ndụ, n'ihi na ọ bụghị a nọdụ mmadụ mmadụ a na-esi mmụọ mmụọ.

## Isi Nke Abụọ
## ANWỤ KEE A HỤ IHE NTE GBURU

Ozigbo dimkpa ise ahụ si Ụmụnka were bịa lawara, Eze Ụzọemezie zipụ odibo ya n'esepụghị aka ka ọ ga kpọọrọ ya Ọjịgwe. Ọjịgwe bụ onye ọrụ ya bụ iji ekwe eziru ọha obodo Alaukwu ozi ọbụla a chọrọ ka ahụhụ na ngwere nụ maka ya. Ozigbo Ọjịgwe bịara na be Eze Ụzọemezie, ọ gwara ya ka o were ekwe gwa ụmụnwoke niile nọ n'Alaukwu, ma okorobịa, ma okenye, ka ha gbakọọ n'ama Alaukwu n'ụzọ ụtụtụ echi n'ihi na o nwere nnukwu ihe dị mkpa ọ chọrọ ịgwa ha. Ka mgbede anyasị ụbọchị ahụ ruru, Ọjịgwe were ekwe gaa obodo Alaukwu okirikiri were ziruo ha ozi Eze Ụzọemezie gwara ya ka o zie ha. Ọ dịghị onye nọ n'Alaukwu anaghị ege ntị mgbe ọbụla ọ nụrụ ụda ekwe Ọjịgwe, maka na a sị na ọ bụ ekwe kụọ ama agbaa. Ma nwatakịrị, ma okenye, maara otu ekwe Ọjịgwe si ada. Mgbe ọbụla ọ dawara n'Alaukwu, ebe niile na-ada jii maka na onye ọbụla na-atọgbọ ntị ya n'ala ka o were

nụtachaa nke ọma ihe Ọjịgwe na-ezi ndị obodo.

Eze Ụzọemezie mechaa zipụkwa odibo ya na mgbede abalị ahụ, ọ ga kpọọrọ ya ndị ndụmọdụ ya niile. N'etufụghị oge, ha niile zukọọ n'obi ya n'ihi na nkịta sị kama ọ ga-ajụ oku, ọ jụ ozi. O bido kọwara ha otu Nze Iyiegbu siri zite ndị mmadụ ka ha bịa jụta ya na ndị Alaukwu ihe mere Ọhahụrụ. Ọ gwara ha na otu ndị Ụmụnka si were bịa ije ahụ gosiri ya na agwọ nọ n'akịrịka. Ọ bụrụ na ha chọchaa Ọhahụrụ ha ahụghị ya, ha ga-eji maka ya mee ihe ọ ga-abụ ntị nụ, ọ sụwa wuruwuru.

Oge ọ kọchaara ha ihe ndị ahụ, ọ rịọkwara ha ka ha were nwayọọ chee nke ọma maka okwu ahụ ma sorokwa ya tụpụta aro otu a ga-esi tigbuo ya bụ odudu tadoro ha n'amụ n'ihi na ọ bụ a nyụkọọ amịrị ọnụ ọ gbọọ ụfụfụ. Eze Ụzọemezie gwara ha na kemgbe ndị Ụmụnka bịachara maka Ọhahụrụ na obi erubeghị ya ala maka na ọ maara nke ọma na

ndị Ụmụnka alakpughị rahụ ụra. Ọ bụ ya kpatara o jiri kpọkọọ ha n'abalị ahụ n'ihi na ọ bụrụ na o mewe mgbe mgbe, okwu ahụ egbepụ ahịa. Mgbe ndị ndụmọdụ Eze Ụzọemezie nụchara ihe a, o wutere ha nnukwu otu e si ekwu na a na-achọ Ọhahụrụ, achọ. Ha niile maara onye Ọhahụrụ bụ n'ihi na ọ bụ ya ka ha na-azụta ụtaba ha na-akpọ.

Kemgbe Eze Ụzọemezie kọchaara ha na ya bụ ihe, ọ dịghị onye n'ime ha ọnụ kwere kwuo okwu. Ihe ha nụrụ riri ha ọnụ. Naanị ihe ha na-eme bụ onye nọkata, ọ bụpụrụ ihe ọjọọ asọmmiri n'ala ma gbakwaa n'aka. Ha nọkata, ha ajụọ Eze Ụzọemezie ma akụkọ ahụ o mere eme n'ezie. Mana, ọ gwara ha na ọ bụrụ na o meghị eme na ndị Ụmụnka agaghị achọrọ Ọhahụrụ bịawa. Ọ sị ha na naanị ihe ọma ha ga-emere ya na ndị obodo Alaukwu bụ inyere ya aka tụpụta aro otu ha ga-esi chọta Ọhahụrụ ma ọ bụrụ na ọ ka nọ ndụ. Mana ọ bụrụ na ọ nwụọla anwụ, ka ha mara otu ha ga-esi chọpụta ihe riri isi ya tupu ndị Ụmụnka abịaghachi ọzọ. E mechaa Eze

Ụzọemezie were sị ha, "Gekwaanụ ntị, ọ bụghị na egwu na-atụ m maka ndị Ụmụnka ịbịa kpụrụ mụ na ndị Alaukwu na ndụ, kama ọ bụ ka e mee ka obi ruo ha ala maka na ọ dịghị onye obi ga-atọ ụtọ ma a napụ ya onye nke ya n'ike. Ọ bụrụkwanụ na unu gbachi okwu ahụ nkịtị, ọ ga-ebutere anyị nnukwu ọdachi nke nwere ike ibute ọgụ n'etiti anyị na ndị Ụmụnka. Ọ bụghị naanị ọgụ o nwere ike ibute kacha eche m. Kama ọ bụ aha ọjọọ ọ ga-ewetara obodo anyị nke ga-eme ka obodo ndị gbara anyị okirikiri kwụsị ịbịa ahịa na be anyị Ụbọchị Afọ, maka na ọ bụghị onye hụchaa ebe ọ ga-anwụ, ọ chọrọ ọnwụ gawa.

Onye hụrụ ebe a na-eme arụ were hapụ itipụrụ ala mkpu maọbụ hụ ebe e mere arụ were hapụ ime ka ntị nụ ya, mata nke ọma na ọ bụ nnukwu onye arụrụala. Ọ bụrụ na ala ekpochapụwa ndị metara arụ, onye ahụ ga-eso na ndị ọ ga-ekpochapụ. Ndị mmadụ gọwakwanụ ndị mere arụ ọfọ, onye ahụ mata na o so na ndị a na-agọ ọfọ ahụ.

Ka Eze Uzoemezie kwuchara okwu, otu onye n'ime ndị ndụmọdụ ya bu ụzọ were kwuo okwu bụ Nzeka. Ọ bụ ya bụ onye akụkọ ahụ a kọrọ banyere Ọhahụrụ kacha wute n'ihi na ọ bụ mgbe ahụ a kọchara ya ka o jiri mara na onye ahụ ọ nụrụ mkpu akwa ya mgbe Nwọhịa na ndị otu ya ji mma edula ya mmụọ bụ Ọhahụrụ. Nzeka kelere Eze Uzoemezie na ndị ndụmọdụ ibe ya were sị ha, "Ndị be anyị, ikwikwii nyụrụ ahụrụ were sị ụmụnna ya kweere ya egwu, ha sị ya tụfịakwa na a naghị ekwere ihe ọjọọ egwu. Onye pụtara ụwa sị na ihe ọjọọ dị mma omume, biko ihe ọjọọ kpọwakwa ya ihu kwa ụtụtụ. Onye hụkwaranụ ihe ọjọọ were kpuchie ya ka ndị ọzọ ghara ịma, marakwa na ihe ọma agaghị eru ya aka n'ụwa a. Okwu a a na-ekwu ugbua banyere Ọhahụrụ na-agba m anyammiri maka na Ọhahụrụ bụ dimkpa ọma ewu na ọkụkọ maara nke ọma na be anyị a bụ Alaukwu. Biko ụmụnne m, tupu anyị atụpụta aro ọbụla banyere ihe mere Ọhahụrụ, ọ ga-amasị m ka anyị burugodu ụzọ jide Nwọhịa na ndị otu ya mgbe ọha obodo gbakọrọ n'ụzọ

ụtụụ echi ka ha kọwaara anyị onye bụ onye ahụ ha ji mma kpọlaa mmụọ n'abalị mkpụrụ ụbọchị abụọ gara aga n'ime ịkpa dị n'ụzọ e si ala Ụmụnka."

Ozigbo Nzeka kwuru ihe a, mkpu pụrụ onye ọbụla n'ime ha n'ọnụ, akpataoyi ju ha ahụ. Ha niile maara Nwọhịa nke ọma dị ka onye na-eme naanị arụ n'obodo ha. Ọ dịghị mgbe ọ na-abụ a mawa atụ ihe ọma e cheta ya. Naanị ihe e ji mara ya bụ ime ihe ala sọrọ nsọ. Ọ dịghịkwanụ ihe arụ ọbụla a kpọrọ ya aha na o so were mee n'Alaukwu, a na-agọtara ya agụgọ na o soghị mee. Maka na ndị Alaukwu maara nke ọma na ihe ọbụla a sị na Nwọhịa mere, ọ bụrụgodu na aka ya adịghị na ya, mgbazi ọnụ ya ga-adịrịrị ya. Eze Ụzọemezie na ndị ndụmọdụ ya ndị ọzọ dụnyechara aka n'agba were na-ele Nzeka n'ihe ọ na-ekwu,

Nzeka mechaa sị ha, "Ihe kpatara mụ jiri sị ka e burugodu ụzọ jụọ Nwọhịa na ndị otu ya bụ maka udịrị ihe m hụrụ n'anyasị ụbọchị

Afọ ahụ gara aga. Ihe mụ hụrụ karịrị anya m. Ọ bụ ụdịrị ihe ọ ga-abụ anya hụchaa ọ hapụgodu ịgba mmiri gbaa ọbara. N'ezie, obi kpọrọ ụfọdụ ndị mmadụ Chukwu kere otu a O siri kee anyị, nkụ! Ọ dịegwu!! Azụchara m ahịa ụbọchị Afọ ahụ, were ehihie lọta, tụtụrụ mma gawa ọrụ n'ubi ebe mụ kọrọ ji n'ịkpa. Chi jibidoro m oge mụ na-alọta. Ka mụ na-akwado ka mụ si n'ọhịa mapụta n'ụzọ mụ ga-esi lọtawa, ka mụ nụrụ olu mkpu akwa otu dimkpa na-eti. M were nwayọọ dakpuo n'ime ọhịa ebe mụ nọ, si otu ebe nyoo anya nke ọma ka mụ mara ihe na-eme onye na-eti mkpu ahụ. Mana, ụmụnne m, arụ mere! Ihe mụ hụrụ adịghị mma ịnụ na ntị. Ahụrụ m dimkpa atọ ebe ha ji mma were na-egbuka nwoke ahụ ka a na-egbuka isi akwụ. Naanị akwa arịrị ka nwoke ahụ na-ebe mgbe ọ na-ala mmụọ. Mana ihe riri m ọnụ nke ukwu bụ mgbe mụ lere anya nke ọma ka mụ mara ma m ga-amata ndị na-arụ ala ahụ ka mụ hụrụ Nwọhịa na Okechi ebe ha jicha mma ha n'aka were na-eche nwoke ahụ ka ha mara ma ọ ga-atụ akpị ọnwụ ọzọ. Mana onye nke

atọ so ha bụ onye mụ ahụghị nke ọma. Ọ bụ mgbe anyị kpatara mmadụ abụọ ahụ bụ Nwọhịa na Okechi, aka, ha akpọpụtakwuo onye nke atọ. Ọ bụrụ na a jụọ ha, ha jụ na ha agaghị ekwu eziokwu, sị taa ha ahụhụ kpụ ọkụ n'ọnụ ka eziokwu si ha n'ọnụ pụta n'ihi na ihe mụ na-ekwu banyere ha bụ eziokwu. Kama ihe mụ enweghị ike ịkọwa nke ọma bụ ma onye ahụ ha gburu ọ bụ Ọhahụrụ.

Mana nke ahụ enyeghị nsogbu n'ihi na ọ bụ e buru ụzọ zọta ala tupu a zọwa ite. Ọ bụ mgbe Nwọhịa na Okechi kwetara na ha gburu mmadụ ka a ga-eji were jụpụta ha onye ha gburu. Unu anwụla gboo. Daalụkwanụ."

Mgbe Nzeka kwuchara okwu a, Eze Uzoemezie na ndị ndụmọdụ ya ndị ọzọ na-efe naanị n'isi iji were gosipụta otu akụkọ ahụ Nzeka kọọrọ ha si arụ ha afọ. Ọ dịghịkwa onye n'ime ha gbaghara ihe ọ kọrọ agbagha maọbụ jụwa ya ma ihe ahụ o kwuru ọ bụ ihe mere eme n'ezie, n'ihi na ha maara na Nzeka bụ otu n'ime ụmunwoke e ji

eziokwu were mara n'Alaukwu. Ọ naghị achọ iji anya ya abụọ ahụ ihe ọjọọ. Mgbe ọbụla ọ hụrụ ihe dị otu ahụ, ọ ga-emereịrị ka ntị nụ ya n'ihi na a sị na ọ bụ a hụ e kwughị na-egbu okenye.

Nzeka bụkwa onye ketara oke nke ọma n'amamihe nke ụwa. Ọ maara ihe bụ anya e lere ele na nke a rọrọ arọ. Ọ bụ ụdịrị omume ndị a ọ na-eme kpatara ndị be ha jiri họpụta ya ka o soro na ndị ga na-enye Eze Uzoemezie ndụmọdụ. Maka na ndị ndụmọdụ Eze Uzoemezie bụ naanị ndị ṅụjuru mmiri ara nne ha afọ, mejupụtara ya. Onye ọzọ kwuru okwu oge Nzeka kwuchara nke ya bụ otu okenye tọchara ndị ndụmọdụ Eze Ụzọemezie ahụ niile, aha ya bụ Alagbaọsọ.

Ka o kelechara Eze Ụzọemezie na ndị ndụmọdụ ibe ya, ọ sị ha, "Bikonụ ụmụnne m na ụmụnna m, onye ọbụla nọ ebe a ugbua ga-eji ihe Nzeka kwuru wee mara na ajọ ihe na-arịzi ibe ya elu ugbua na be anyị a bụ Alaukwu. Agaghị m ekworo na mụ nọ

n’ukwu ugere were sị na ugere anaghị elu ilu. Ọ bụ eziokwu na mụ bụ onye Alaukwu mana ndị ihe ọjọọ na-eto afọ na be anyị ugbua na-arụzi ala otu o siri masị ha. Ọ bụrụ na anyị gbachị ha nkịtị ka ha puru eze elu a gawa n’ihu, unu amara na o nwere oge ọ ga-eru, ha ebido were etiti ehihie tọrọwa mmadụ na ndụ, na-ere.

O teela Nwọhịa jiri rụwa ala na be anyị a, na nke a ka nkata ga-ekpudo ya bụ ọkụkọ. Anyị agaghị ahapụ ya na ndị otu ya maka kama otu mkpịsị aka anyị ga-eduba anyị n’ihe ọjọọ, anyị ebepụ ya tufuo. Ọ bụrụ na a jụọ ha ihe ha mere ha ekwughị eziokwu anyị akpụrụ ha bịa n’obi Eze ebe a, taa ha ahụhụ ka eziokwu si ha n’ọnụ pụta. Maka na ọ bụrụ na e nwude dimkpa n’ala, o kwetaghị, a pịtọwa ya ọnụ o kweta ozigbo. Anyị agaghị anọ n’ụlọ ewu amụọ n’ọgbịrị. Mana ihe mụ na-arịọ onye ọbụla n’ime anyị bụ ka anyị buru ihe ọbụla e kwutara ebe a n’obi tutu ruo n’ụtụtụ echi mgbe kpọrọkpọtọ ga-agba n’ihu ehi. Ọ dịghị ihe ọzọ a ga-etinyewekwa n’ihe ndị ahụ

Nzeka kwuru n'ihi na okwu ya adịghị mma ọsịsa. Unu anwụchula. Ndewo nụ o!"

Oge Alagbaọsọ kwuchara okwu, Eze Ụzọemezie kelee ha n'otu n'otu ọ kachasị Nzeka otu o siri mee ka ije beere ha nkenke. Ọ gwakwara ha ka ha biko gbaa mbọ hụ na ha bịachara n'oge n'ama ebe ahụ a kpọrọ ọha obodo, oku. Ọ gwakwara ha ka ha gbaa mbọ hụ na okwu ahụ abaghị ndị obodo ntị tutu ruo echi a kpọrọ ha oku. O bupụtara obere mmanya o nwere, ha niile ṅụọ ma gbasakwaa. Chi ejiela nke ọma mgbe ha jiri gbasaa ya bụ nzukọ nke mere na onye ọbụla laruru na be ya gara dina ala were na-eche ka chi foo. Mana ka e kwuru sị a kọla ọgwụ, e kwuru sị e fela ajụ? Ụfọdụ n'ime ndị ndụmọdụ eze ahụ laruru na be ha wee were nwayọọ tụnyechaa ndị nwunye ha azụ maka ihe na-akpọtụ n'obodo ha.

Ozigbo chi foro, ụmụnwoke niile nọ n'Alaukwu, ma okenye, ma nwata, jupụta n'ama ebe a kpọrọ ha oku. Okechi na

Ọnwụha sokwa ibe ha wee bịa ka ha mata ihe Eze nwere ọ ga-agwa ọha obodo. Ha jee otu ebe nọkọọ ọnụ n'ihi na nnụnụ otu ụdịrị nku na-efekọ ọnụ. Mana, ha amaghị na anwụ ekeela e were hụ ihe nte gburu. Mgbe Eze Ụzọemezie hụrụ na ọgbọ ejula, o were si ebe ọ nọ bilie kelee ha,

"Alaukwu kwenụ o!
Ya a a a!
Alaukwu kwenụ o!!
Ya a a a!!
Mụọnụ o o !!!
Ya a a a!!!
Zụọnụ o o!!!!
Ya a a a!!!!
Alaukwu kwezuonụ o o!!!!!
Ya a a a!!!!!

"Ehe e e, ndị be anyị kwuru okwu sị na ọ bụ e kwe ekele, ihu asaa. Ekelere m unu otu unu siri pụta n'igwe ịbịa mata ihe mụ na-akpọrọ unu. Eji m n'aka na ọtụtụ n'ime unu nwegachara ebe dị iche iche ha ga-eje taa.

Achọghị m igbu onye ọbụla n'ime unu oge n'ụtụtụ a. N'ihi ya, aga m agawa n'ihu n'etufughị oge ịkpọ anụ a na-achụ aha, ka anụ ndị a naghị eri eri ghara ịgbagbu onwe ha n'ọsọ. Maka ngwungwu a maara na a ga-atọ atọ, ọ baghị uru ịtụwa ya mbọ maọbụ nyowe ya enyo. Ụmụnne m na ụmụnna m, agwọ nọ n'akịrịka were na-achọ onye ọ ga-ata. Ihe ọjọọ dị na be anyị ugbua a na-emezi chi na-efo, ọ na-atụ ime, na-amụta nwa. Ndị arụrụala nọ na be anyị a bụ Alaukwu na-emezi otu o siri masị ha n'ihi na ha kwetara na ha nwere ike ime ihe ọbụla masịrị ha, nte agaghị atụ, nte tụọ ha bụ ọkụkọ eloo ya. Mana nke ha mere ugbua bụ ìsì kpudoro ọrịa niile. Ihe ndị ***'o ji azụ aga ije a'*** mere n'obodo mụ na unu ugbua bụ ihe ọ ga-abụ ọ bụrụ na anyị amaghị otu anyị siri soo ya ugbua, o butere anyị okwu agaghị ekwe anyị nkwụcha. A sị onye ekotaghị, ọgọdọ ya ekotara ya. Nke ọgọdọ anyị na-achọ ikotara anyị ugbua bụ okwu ga-eri isi ọtụtụ anyị nọ ebe a ugbua. Ọ bụrụ na anyị egbochighị ya bụ mmiri ugbua ọ dị n'oboaka, o bo obodo

anyị a bụ Alaukwu apa ala ala. Ihe mụ jiri kpọkọba unu bụ ka onye ọbụla wepụta obi ya ka anyị gwuso ndị omekome a na-achọ ịkwabaga anyị na nsogbu. Maka na ezinaụlọ ọbụla dị n'Alaukwu ga-eketa oke na ya bụ ọdachi ma ọ kpọtụọ."

Mgbe Eze Ụzọemezie na-agwa ndị be ha okwu ndị ahụ, ebe niile dara jii ka ebe mmadụ nwụrụ, Ha niile dụnyechara aka n'agba na-ele ya naanị n'anya, na-ege ya ntị ka ọ kpọọ okwu aha n'ihi na ha maara na egbe fee elu, fee ala, ọ ga-eberịrị n'elu osisi. Mana Nwọhịa na ndị otu ya ewerela ire ha gụọ eze ha ọnụ n'ebe ha nọ, wee mara ihe bụ isiokwu Eze Ụzọemezie ji were kpọọ ndị obodo, oku. Maka na ọ bụ a tụọ ilu nkịrịnka nkata, agadi nwaanyị amara na ọ bụ maka ya ka a na-ekwu. Mana, naanị ihe kara ha obi bụ na a na-asị na a kpara ose, na a kpara ose, ọ bụ onye a hụrụ n'ukwu ose ka a maara kpara ose.

Eze Ụzọemezie jụọ ha, "Ọ dịla onye n'ime unu hụrụ ụwa naanị otu onye bi? Ha sị ya mba! O were sị ha, "Ụwa naanị otu onye na-aka mma n'afọ maka na onye biri naanị ya, odudu atagbuo ya. Ọ kwa unu maara nke ọma na Afọ bụ nnukwu ahịa na be anyị a bụ Alaukwu. Obodo dị iche iche gbara anyị okirikiri na-abịa azụ ahịa na ya kwa Afọ ọbụla. Ọ bụ ya ka obodo dị iche iche jiri mara obodo anyị. Mana nke kacha nke bụ na ọ bụ na ya ka anyị na-erepụ ihe ndị ahụ anyị na-akọpụta n'ubi were na-enweta ego anyị ji egboro ezinaụlọ anyị mkpa ji ha. Ọ ga-adị unu mma ma unu mechaa n'ikpeazụ nụ na o nweghịzi mba na-abịa azụ ahịa na be anyị" Ha niile tie sị Chukwu ekwekwala ka ngwere gbaa ajị.

Eze Ụzọemezie sị ha, "Ya atụkwala unu n'anya na ahịa Afọ anyị a e ji ama atụ ebe niile ga-emecha bụrụ ihe e ji eme ụka ọchị maka na ọ dịghị mgbe mmadụ ga-abụ ọ hụchaa ebe ọ ga-abụ ọ gachaa ọ gaghị alọta, ọ kachie ntị na-agarịrị ebe ahụ. Ndị ọma mụ

ji eme ọnụ, ndị mụ ji eko, ka anyị hapụnụ ụtọ nkwụ na isi nkwụ ka anyị ṅụọnụ ihe nkwụ gbatara. Ọ bụ na mkpụrụ ụbọchị atọ gara aga ka ndị Eze Iyiegbu zitere na nke m gbakporo m n'ụzụ ụtụtụ were na-akọwa na ha ahụbeghị Ọhahụrụ nke ahụ unu ji ire ụtaba wee mara, anya. Ha kwuru na ha ga-abịaghachi echi ka ha mara otu anyị na Ọhahụrụ siri jee. Otu ha siri bịa ije ahụ gosiri m na kama ha agaghị ama isi ihe mere Ọhahụrụ, kama isi waba, afọ rụwa, nke ka ibe ya gbuo. Ọ dịghị ụta ọbụla mụ na-ata ndị Ụmụnka n'ihi na ọ dịghị onye ọ ga-abụ a napụ ihe o jiri biri, ọ na-atọ ya ka ero. Bikonụ, ndị mụ ji were biri, a sị a nyụchaa nsị a kapịaghị ya ọnụ, ọ bụrụ otoro. Onye ọbụla n'ime anyị maara ihe banyere ebe Ọhahụrụ nọ maọbụ ihe mere ya, biko pụta kọọrọ anyị ka anyị mara otu anyị ga-esi soo ndị Ụmụnka. Daalụnụ o o!"

Ka Eze Ụzọemezie nọọrọ ala, anyammiri gbara ọtụtụ ụmụnwoke ndị maara Ọhahụrụ. Ọ dị ha ka ihe ahụ e kwuru banyere Ọhahụrụ abụghị eziokwu n'ihi ọtụtụ n'ime ha zụchara

ya ụtaba na mgbede ụbọchị Afọ ahụ. Ha na-agbapụ n'aka, na-asị ala Alaukwu edowekwala onye ọbụla aka kwere gbuo Ọhahụrụ n'ihi na onye gburu ya bụ onye ihe ọma na-asa afọ.

Nwọhịa, Okechi na Ọnwụha sokwa ibe ha na-etipụrụ ala mkpu banyere akụkọ a na-akọ maka Ọhahụrụ ijiri gosipụta na ọ bụ otu ndị ọzọ si anụ maka ya ka ha sikwu anụ ya.

Onye ọzọ kwuru okwu mgbe Eze Ụzọemezie gwachara ndị ala ya okwu bụ Alagbaọsọ. Alagbaọsọ bụ okenye ndị Alaukwu na-ege ntị ma o kwuwe okwu. Ha na-ejikwa okwu ya eme ihe n'obodo n'ihi na ha maara ya nke ọma dị ka onye na-akwụwa aka ya ọtọ n'ihe ọbụla ọ na-eme. Ọ sịrị ha, "Ụmụnne m, anyammiri na-eju m anya mgbe ọbụla mụ chetara ajọ ọnọdụ obodo anyị na-alaghachizi na ya ugbua. Ihe anyị jizi eme dimkpa na be anyị ugbua bụ ịgwọta oke ọgwụ anyị ji edowe ibe anyị n'ọnọdụ ọjọọ, na igbu onye ọbụla ruru anyị aka. Unu lee anya, unu ga-

ahụ na ọtụtụ n'ime anyị bụ ndị azanwughị oku a a kpọrọ n'ihi ụdịrị ọrịa dị iche iche a na-ekwu na ọ bụ mmadụ ibe ha nyere ha. Ụfọdụ ka e tinyeere nke ha na nri maọbụ na mmanya. Ụfọdụ ka a kọwara na ọ bụ n'ụzọ ka a ghachiere ha nke ha, ha ṅefee ya maọbụ zọọ ya ọkpa. A naghịzi eji ọnụ ekwu ndị nwụrụla anwụ ndị nke a na-ekwu na ọ bụ ọtụụ n'ime anyị na-eji ọgwụ akpọgbu ha. Mana ugbua, ya bụ okwukwe n'aka agafeela nku aka. Ihe anyị mụtazịrị ugbua bụ idula onye ndị obodo ọzọ ji wee kwụrụ na be ha, mmụo. Ọ bụrụ na anyị gbachị nkịtị unu amara na ụmụ anyị na-amụta nọ na nsogbu n'ihi na ọ bụ ụkpụrụ anyị tọọrọ ha ka ha ga-eso. Maka na ihe ọbụla anyị metara bụ n'isi ha ka ọ ga na-ahịọtụ, n'ihi na arụ ọbụla nna metara na-adịri ezinaụlọ ya. Mana, ka mụ jụọ unu obere ajụjụ, unu chọrọ ka anyị hapụ arụ ndị a ka ha mere na-aga? Onye ọbụla nọ ebe ahụ gbụpụ asọ, tie "Tụfịakwa! Tụfịakwa!! Tụfịakwa!!!, kama anyị agaghị akapịa okwu ọnụ banyere ndị ajọ mmadụ nọ n'etiti anyị

taa, kama anyị ahapụ ịga ebe ọbụla n'ụbọchị taa."

Alagbaọsọ kelee ha, were sị ha, "Ugbua mụ chọputarala na ihe ndị ahụ a na-eme atụrụ dịzi ebulu iwe, ọ ga-amasị m ka onye ọbụla n'ime anyị dị njikere ka anyị burunụ ụzọ mara otu mmiri siri baa Ọhahụrụ ntị. Ekelekwaa m unu ọzọ, unu anwchula."

Oge Alagbaọsọ nọdụrụ ala, iwe na ọnụma jupụtara mmadụ niile ihe ọjọọ na-arụ afọ nọ ebe ahụ, obi. Naanị ihe ha na-ekwu bụ a mara nke a na-eme sị mewe ọsọọsọ n'ihi na ọ bụ e mee ngwa e meghara ọdachi. Ọ bụrụ na ọ bụ ka a gaa n'agbara ndị Dagburu mara ndị ahụ nyụrụ ya bụ ihe na-esi, ka ha mara. Ọ bụrụkwanụ ịkpọpụta ndị ahụ aha ha na-esi isi n'ihe ọjọọ n'obodo ha ma chọọ ụzọ ha siri dulaa ha mmụọ maọbụ bo ha apa, ọ ga-abụ ha cheta, ha ebewe akwa, na ha nọ ya. Kama ha kpụpụtachaa ha, ọ bụrụ na o nweghị ihe ha nwere ike ime ha, ha akpụrụ ha kpụnye ndị Ụmụnka ma ha bịa echi iji were kwụọ ha

ụgwọ Ọhahụrụ. Igbo sị a chọwa anya anụ a gaa n'isi ya. A gụwa ndị bu ite ihe ọjọọ n'isi n'Alaukwu, e buru ụzọ gụpụta Nwaọhịa maka na ọ dịghị nnukwu ihe ọjọọ na-ada ụda e mere n'Alaukwu aka ya anaghị adị na ya. Kemgbe a na-ekwu okwu ihe banyere ndị ahụ na-eme n'Alaukwu, anya mmadụ niile zara oku ahụ Eze Ụzọemezie kpọrọ ha, na-aga ebe Nwọhịa nọ n'ihi na ọ bụ ihe onye na-eme ka e ji mara ya. A maara Okechi na Ọnwụha dị ka ndị arụrụala, mana nke ha anaghị eti mkpu ka nke Nwọhịa.

Mgbe Alagbaọsọ kwuchara okwu nọdụ ala, onye ọzọ gwara ndị be ha okwu bụ Nzeka. Ozigbo o bilitere ka o kwuo okwu, ha bido tuwe ya aha a na-etu ya. ***"Ọ-hụ-ọ-kaa! Ọhụọkaa!! Ọhụọkaa!!!*** N'ihi na ha maara ya dị ka mmanya, ọ naghị ezo ahịhịa. Ihe ọjọọ ọbụla ọ hụrụ maọbụ nụ na ntị na e mere, o kwuo ya ka ndị mmadụ mara maka ya.

O were sị ha,
'Alaukwu kwenụ o o"

Ya a a!
“Alaukwu kwezuonụ o o”
Ya a a!!

“Ndị be anyị, mmiri alaala n’ọhịa ga zoo. Arụ na-eme ugbua na be anyị. Kama ihe onye metara o were isi ya buru. Mana ugbua ihe mmadụ ụfọdụ metara na-achọzi ka o bụrụ n’isi anyị ma rie isi anyị. Unu ọ ga-ekwe ka nke ahụ mee?” Ha niile tie mba, were sị kama mmiri ga-eri ha, ọ tọrọ ọgọdọ ha ma n’ukwu. Nzeka sị ha, “Daalụnụ maka ihe unu zara m. Onye ọbụla n’ime unu dịkwa njikere maka ịtọpụta ọgọdọ ọ ma n’ukwu achịnye na mmiri ugbua maka na ọ bụrụ na anyị gbachị ya bụ mmiri nkịtị, o rinyụọ anyị na ọgọdọ anyị ma n’ukwu, anya. Ụkpana na-ere n’ọkụ ọ sị na ọ na-aha mmanụ. Kama, matakwanụ na ijiji ọbụla enweghị onye ndụmọdụ na-eso ozu ala n’ili. Onye ọbụla n’ime anyị wepụta obi ya ka anyị gwusoonụ ajọ ihe dị n’obodo anyị ugbua, maka na ọ bụrụ na anyị gbachị nkịtị, o nweghị onye maara ma ọ bụ ya, ma ọ bụ ikwu ya, ma ọ bụ ibe ya, ka ọ ga-erusa

ọzọ n’ihi na ọ bụrụ na a gbaghịrị azụ owere mgba, ọ naghị echi. Aga m ebegodu okwu m a nkenke ka Eze Ụzọemezie were nwee ohere kọwapụtara anyị otu anyị ga-esi kwọọ onye ukwu wara. Maka na ọ bụrụ na mụ ekwuru gawa, e nwere m ike isi na nkute ụtaba baa ime ahịa. Ọ gwụlanụ ka ọ ha m n’ọnụ. Chukwu dubenu anyị.”

Ozigbo Nzeka sepụrụ ọnụ n’okwu, iwe ekweghịzi ụmuokorobịa nọrọ otu ebe. Ha na-asị Eze Ụzọemezie ọ mara ihe a ga-eme ozigbo o kwuo, ka ha mewe ya n’esepụghị aka maka na ha achọghị ka a tọ na ka mụ bịa, ka mụ bịa, kpatara awọ ejighị puo ọdụ. Ha sị ya kpọọ otoro aha ka otoro laa n’ihi na ọ bụ onye zowe ọrịa, ọrịa egbunyụọ ya anya. Na ha agaghịkwa anọ na mmiri ncha abaa ha anya.

Eze Ụzọemezie were sị ha, “Esu sị na obi adịghị onye zọrọ ya ọkpa mma, kedụkwanụ maka ya onwe ya a zọrọ ọkpa. Ihe a sị otu a ewute unu, kedụkwanụ otu ọ dị unu ka obi ọ

ga-adị ndị Ụmụnka e gburu Ọhahụrụ ha ji aba mba?”

“Onye ọbụla dịkwa nkwadobe igosipụta otu ya bụ ihe si ewute ya n’obi ugbua maka ọ bụrụ na okenye kechaa ekpe ọ nwụghị ihere emegbuo ya. Ndị be anyị sị na ọ na-abụ e kwuo okwu ugboro ugboro onye ntị chiri anụ ya. Ọ na-adị mma ka a kpọọ ọrịa aha ka dibịa wee mara ihe ọ na-agwọ. Nwọhịa na Okechi pụta n’ọgbọ ebe a ka ha kọwaara anyị onye ha ji mma gbuo n’ụzọ ịkpa jikọtara anyị na ndị Ụmụnka na mgbede ụbọchị Afọ gara aga. Akụkọ m natara na-akọwa na ha dị mmadụ atọ were rụọ ala ahụ. Ọ ga-adị mma ma ha kpọpukwuo onye ahụ mere ha onye nke atọ. A sị chọ ihe mere azụ dị na ngụga, a jụo ya oke.”

Ozigbo Eze Ụzọemezie kpọrọ ha aha, naanị ihe ọtụtụ ụmụnwoke nọ ebe ahụ na-ekwu bụ na ha ma na aka ha ga-adị na ya. Ugbua, iko ha ejula. Ụmụokorobịa ndị ọ dị ka ‘ihe ga-eme echi mewe taa’ gaa ebe ha nọ

kpụpụtachaa ha n'ọgbọ were na-asị ha na ọ bụ na nke a ka ha ga-ahụ ihe ha metara. Maka na ọkụkọ tụkata ala, olu ahịa ya ngọ. Ozigbo a kpụpụtara ha, Ọnwụha kpọọ nkụ ebe ọ nọ n'ihi na ọ maghị uche ndị e ji n'ala. Ụmụokorobịa tikwara iwu ka onye ọbụla ghara ịpụ tutu e mechaa ihe a bịara. Onye tụpụ ọkpa, ha akpara ya aka, gụnye ya na o so were gbuo Ọhahụrụ. Onye ọbụla kụọ paa ebe ọ nọ maka e jighị ihe a na-agba na ntị agba n'anya.

Nwọhịa gwara ndị ọha obodo na ọ dịghị ihe ọbụla ọ maara banyere Ọhahụrụ. Ọ kọwakwara na ọ zụtara Ọhahụrụ ụtaba ụbọchị Afọ ahụ. Na Ọhahụrụ nọ n'ahịa ere ụtaba mgbe ọ lawara na be ya. Ọ bụ ugbua bụ izizi ọ na-anụ na a na-achọ Ọhahụrụ achọ. Iji were kwuo eziokwu, na ọ dịghị ihe ọbụla ọ maara maka Ọhahụrụ. Na a kpacha anya kpụpụta ya n'ọgbọ ebe a maka ihe ọ maghị maka ya. Oge Nwọhịa zachara ọnụ ya, Okechi gọkwara agụgọ nke ya were na-akọwa na Ọhahụrụ bụ ezigbo enyi ya nwoke

ma ya fọdụzịkwa ya onwe ya iji aka ya were gbuo ya.

O kwuru na o nweghị mgbe Ọhahụrụ bịara ahịa ọ naghị enye ya ụtaba na nkịtị. Kedụkwanụ otu ọ ga-esi chefuo ihe niile ndị ahụ ọ na-emere ya were nwee obi ọ ga-eji gbuo ya. “Tụfịakwa, Chineke ekwekwala ihe ọjọọ! Ọ bụ ugbua ka mụ ji ntị m abụọ anụ na ndị Ụmụnka na-achọ Ọhahụrụ achọ. Ihe agaghịkwa adịrị onye ọbụla gburu Ọhahụrụ mma.” Nke a bụ olu okwu Okechi.

Ozigbo ha abụọ kwuchara okwu, Eze Ụzọemezie nye iwu na ọ dịghị onye ọbụla ga-ala, na a ga-akpụrụ ha gaa n’obi ya ka a nọrọ ebe ahụ taa ha ahụhụ wee mara ma eziokwu ọ ga-esi ha n’ọnụ pụta. Ihe Eze Ụzọemezie kwuru tọrọ onye ọbụla nọ ebe ahụ ụtọ. Ha kpụrụ Nwọhịa na Okechi gawa na nke ya. Mmiri atabidola azụ! Ha amaghị na ọ bụ otu ahụ ka aka ga-esi kpara ha. Mana ihe kacha ewute Nwọhịa na Okechi bụ na onye ha na ya yịrị chụọ nta sizi na ụkwụ ha

dị ka ụkwụ anụ. Ọnwụha, ha na ya soro gbuo Ọhahụrụ sooro kpụpụta ha n’ọgbọ mgbe ha nọ n’ama Alaukwu, ma sorokwa ugbua kpụrụ ha na-aga na nke Eze Ụzọemezie iji were gosi na ọ dịghị nke ọ maara gbasara ọnwụ Ọhahụrụ. Ọ dịghị otu ha ga-esi kpọọ ya aha na o so ha gbuo Ọhahụrụ maka ha mee otu ahụ ọ bụrụ na ha arapụtala onwe ha. Ka a kpụ ha aga na nke Eze Ụzọemezie, ndị mmadụ na-ekwu na ọ bụrụgodu na ọ dịghị onye ọbụla e nwetara gburu Ọhahụrụ na aka Nwọhịa ga-adịrịrị na ya n’ihi na ọ bụghị a hụchaa ukwu ji a na-asụ mbazụ n’ala. Maka Igbo kwuru okwu sị na ọ bụrụ na a ga-egbu anụ ndị merụrụ ala, a ga-eburugodu ụzọ gbuo mkpi.

## Isi Nke Atọ
## ISI KOTE EBU Ọ GBAKACHAA YA

Tupu ụmụnwoke ndị Alaukwu akpọrọ Nwọhịa na Okechi ruo na be Eze Ụzọemezie, ọ wụsaala ebe niile n'obodo ahụ na Ọhahụrụ nwụrụ. Na ọ bụ Nwọhịa, Okechi na otu onye a mabeghị onye ọ bụ, ka a na-enyo enyo na aka ha dị n'ọnwụ ya. Ahịhịa niile dị n'Alaukwu metụrụ ụṅara ụbọchị ahụ. Ụmụnwaanyị na ụmụaka na-ebe naanị akwa ka ha nụrụ na ọ bụ ụbọchị Afọ gara aga Ọhahụrụ bịara ahịa n'Alaukwu ka ihe mere ya nọrọ mee ya. Mana, ọtụtụ ụmụnwaanyị ndị maara ya nke ọma na-achọ ibepụta mkpụrụ anya ha ma ha cheta otu Ọhahụrụ dị, n'ihi na ọ dịghị ihe e ji dimkpa eme a na-achọ achọ n'ahụ Ọhahụrụ.

Oge ha batara na mbaraezi Eze Ụzọemezie, ọ gwara ha ka ha kpọrọ Nwọhịa na Okechi kpọsa n'etiti mbaraezi ahụ. Ka ha abụọ kwụụrụ n'etiti mbaraezi ahụ, ụmụnwoke ndị ọzọ gbara ha okirikiri were na-eche ka ha

mara ihe bụ uche onye isi obodo ha, maka agadi nwaanyị siwe egheghị eghe, a nọwa m alaghị ala. Eze Ụzọemezie pụta kelekwaa mmadụ niile nọ ebe ahụ, were nyekwa iwu zuru oke ka a hụ na ọ dịghị onye ọbụla si ebe ahụ zọpụ ọkpa maka na nti anaghị ezu ike naanị ma ọ tachara ihe ọ kpụ n'ọnụ. Ọ gwara ha na ihe kpatara e jiri kpụrụ mmadụ abụọ ahụ bịawa na nke ya bụ maka na ọ bụghị naanị otu ụzọ ka e si egbu oke. O kwuru na ebe ọ bụ na ha ewerela nwayọọ jụọ Nwọhịa na Okechi ihe ha maara banyere Ọhahụrụ ha achọghị ikwu, na ha ga-achọ ụzọ ọzọ ha ga-esi jụpụta ha eziokwu n'ọnụ maka ihe e ji akwụta nti abụọ bụ a tawa n'otu o kweghị, a kpụgharịa na nke ọzọ.

O bụrụkwanụ na ha ewere obi umeala gwa ha eziokwu, ha ewerekwa nwayọọ tụlee ihe ha na ha, na ndị Ụmụnka ga-eje ma ha bịaghachi echi. O were sị Nwọhịa na Okechi, "Agwọ a na-akpọ Okporo sị na ọ naghị ata ma ọ bụrụ na ọ kụghị isi ya n'ala. Bikonụ ụmụnne m, tupu anyị esi n'ụzọ ọzọ soo unu, ọ ga-amasị

anyị nke ukwu ma unu were nwayọọ kọwaara anyị otu unu na Ọhahụrụ siri jee, na onye mezuru unu onye nke atọ. Ọ bụrụ na unu mee otu a, ọ ga-adị anyị mma nnukwu nke ga-eme ka unu soro anyị tụpụta aro otu a ga-esi dozie ihe mebiri emebi." Ọnwụha so ibe ya kwụrụ ebe ahụ mgbe Eze Ụzọemezie na-ajụ ndị otu ya ajụjụ ndị ahụ. Obi erughị ya ala maka ọ maghị ihe bụ uche ndị e ji n'ala. O mechaa were obi dimkpa gwa onwe ya na ihe ọbụla ọ hụrụ o were n'ihi na ọ bụrụ na isi nwoke adaghị n'ala o koro n'elu. Oge Eze Ụzọemezie jụchara Nwọhịa na Okechi ajụjụ ndị ahụ, naanị ihe Nwọhịa na Okechi gwara ndị be ha bụ, "Anyị amaghị maka Ọhahụrụ, unu na-akpọ anyị aha na nkịtị."

Eze Ụzọemezie were kelee ha maka ihe ha zara, were baa na be ya chịpụta ogologo ụdọ anọ na mkpụrụ aṅa asatọ zuru oke, wụsa ha n'ọgbọ. Ọ kpọpụta dimkpa isii obi gafere azụ sị ha were ụdọ ahụ kekọta ha aka abụọ na ọkpa abụọ ọnụ n'otu n'otu. Mgbe a na-eke ha ụdọ ndị ahụ, ha nọ na-ele naanị n'anya n'ihi

na nshịkọ sị na ọ ga-anọ ndụ mara ihe e rere ya n'ahịa. Oge e kechara ha ụdọ, tọgbọ ha n'ala, Eze Ụzọemezie jụkwara ha ọzọ ma o sila ha n'obi pụta ikwu eziokwu gbasara Ọhahụrụ, ha sị ya na ọ dịghị ihe ha maara ha ga-ekwu ọzọ n'ihi na ọ dịghị ihe ọbụla ha maara maka ọnwụ Ọhahụrụ. Eze Ụzọemezie were sị ha kọwaara ndị Alaukwu onye ahụ ha gburu n'ụbọchị Afọ gara aga. Ha gọkwara agụgọ na ọ dịghị onye ha metụrụ aka ụbọchị ahụ.

Eze Ụzọemezie were gwa dimkpa isii ahụ ka ha were aṅa ahụ ọ wụsara n'ala ebe ahụ rụwa Nwọhịa na Okechi ọrụ n'ahụ. Ha tụtụrụ aṅa ndị ahụ were dewe ha uri n'ahụ. Mgbe e bidoro pịawa ha ụtarị ahụ izizi, ọ dịghị onye ọbụla n'ime ha anyammiri si n'anya pụta. Ha ekweghị ebe akwa. Naanị n'ude ka ha na-eri ka ebulu. Ha chere na ọ bụ ihe ha ga-eji ndidi digbuo mana egwu dagharịrị n'ikpeazụ. Mkpu akwa ha dara mgbe ha hụrụ na egwu esila n'atịriọgwụ baa n'egberiọba. Ọ bụ oge ahụ ka ha ji mara na imi nkịta na-adị ọjị. A

chụkpuchara ụmụnwaanyị na ụmụaka ndị gbapụtara ka ha mara ihe na-akpọtụ n'obi Eze. Ụmụokorobịa isii ahụ pịakatara Nwọhịa na Okechi ụtarị, ahụ ha dị ka ihe a gbara akpụkpọ, ha wee mara na ụgụrụ na-atụ oyi.

Ọ bụ eziokwu na ọ bụ naanị ụmụdimkpa jupụtara ebe ahụ mgbe ihe ndị a na-akpọtụ, mana e nwere ụfọdụ n'ime ha obi ha bụ obi mmiri. Anyammiri juru ha anya mgbe ha hụrụ dimkpa ibe ha ka ha na-etiwa mkpu akwa ka ụmụntakịrị. E mechaa dọọ ndị na-eme ụdịrị ihe ahụ aka na ntị ka ha kpachapụ anya ha n'ihi na o nwere otu mmadụ ga-esi beruo akwa ebe enyi ya nwaanyị nwụrụ, ọ kọwaa ihe gburu ya. Naanị ihe Nwọhịa na Okechi na-ekwu mgbe a na-apịa ha ụtarị niile ahụ bụ, “Unu na-egbu anyị na nkịtị. Ọ dịghịkwa ihe ọbụla anyị mere n'ihi na ọ bụghị nkịta richaa nsị, eze eree ewu.” Ụdịrị ụtarị a pịara ha dị mma ime ha ka ha chegharịa kwuo eziokwu maka na a pịarichara aṅa asatọ ahụ n'ahụ ha. Mana ka a piachara ha ụtarị ahụ, ọ dị ka a wụsara mmiri

na mkpume n'ihi na ha ahapụghị ihe ha na-ekwu na ha amaghị ihe ọbụla banyere Ọhahụrụ, kwuo ihe ọzọ.

Mgbe Eze Ụzọemezie hụrụ na mmadụ abụọ ahụ ga-eli onye mkpukpu, ọ gwara ndị niile nọ ebe ahụ ka ha chere ya ka ọ bịa. Ọ gwara Nwọhịa na Okechi na ebe ha achọghị ikwu eziokwu, ha aṅụla ngwọ na nkwụ na-abịa.

Eze Ụzọemezie kpọrọ ndị odibo ya mmadụ atọ baa n'ọba ji ya, chịpụta mba ji iri zuru oke n'ihe e ji ji eme, sị ha chịrị ha ga bachaa n'etufughị oge ọbụla. O nyere ha iwu na ọ bụrụ na ha bachachaa ha, ha saa ha. Ha sachaa ha, ha butere ya mmiri ha jiri sachaa ha ma were ji dowe. Eze Ụzọemezie mechaa pụta sorokwa ibe ya nọdụ ebe ha nọ were na-ele mmadụ abụọ ahụ ebe ha na-akpọkwa imi. Onye ọbụla nọ ebe ahụ na-agba n'aka ụdịrị obi ụmụ mmadụ Chukwu kere eke na-enwe. Ụfọdụ ndị mmadụ nọ ebe ahụ nọkatara chewe na e nwere ike aka ha agaghị adị n'ihe ọbụla mere Ọhahụrụ, mana ha amaghị na Eze

Ụzọemezie hụrụ elekentịọba anya tupu ọ gbawa ya ụta. Nzeka na Alagbasọ gakwara n'otu akụkụ nọrọ na-ele anya ka ha mara ihe odu na akụ ga-eje. Ha nọkata, nọkata, ha agbaa n'aka, fee n'isi, tie na o nwere ụmụnwoke ndị nwere obi ọnwụ. Ha sị na ha amaghị na ọ ga-abụ a pịachaa Nwọhịa na Okechi ụtarị, ha ahapụ ikwupụta ihe ha mere. Kama, ha sị na nsogbu adịghị ya n'ihi na tupu e richaa ji, richaa akpụ ya, na kpọrọkpọtọọ ga-agbarịrị n'ihu ehi.

Ozigbo ndị odibo Eze Ụzọemezie mechara ihe o ziri ha, ha buru mmiri ha sachapụtara na ji ndị ahụ wụchaa ebe ahụ ọ nọ. Eze Ụzọemezie kpọpụtakwa ụmụnwoke abụọ, sị ha were mmiri ji ahụ wụọ Nwọhịa na Okechi n'ahụ ha niile. Ha buru mmiri ji ahụ wụọ ha n'ahụ ha niile ebe ahụ ha tọgbọ. N'egbughị oge ọbụla, ọkọ mmiri ji ahụ bido kpawa ha aka dị egwu n'ahụ. Ọkọ ji ahụ gbakakatara ha n'ala ebe ahụ ha nọ, ha nyụchaa amịrị ọkụ n'otu n'otu. Ka o siri karacha ha njọ bụ na ọ dịghị aka ha ji akọ ya bụ ọkọ. Ọ dịghịkwa

ebe ha ga-agbaga. Mgbe mụ jiri mara na ọkọ ji ka ụtarị afụ ụfụ bụ mgbe ha na-eti na-asị Eze Ụzọemezie na ọ ga-akara ha mma na e gburu ha egbu karịa ụdịrị ahụhụ ahụ a na-ata ha.

Ha tọgbọrọ n'ala ebe ahụ na-aghaghari ka agwọ. Ha na-echi onwe ha n'ala ka anụọhịa. Mana mbọ niile ahụ ha na-agba ka ọkọ na-agbaka ha kwụsị ịgbaka ha bụ ọkpa ka ha na-agba na mkpume n'ihi na ihe ji ha jisi ha aka ike. Ọkọ ji ahụ na-agbaka ha rịrị ibe ya elu ozigbo anwụ ụtụtụ jiri nwayọọ bọghepụta were na-achasa ha n'ahụ n'ala ebe ahụ ha nọ anụ ụtọ ihe ha metara. Mgbe a na-ele ha anya ka a mara ma ha ga-asị na mgbahapụ ama bụ na ihe ha hụrụ na ha ahụghịzi ya, ka Eze Ụzọemezie kpọrọ otu odibo ya kwụ ya n'akụkụ wee sị ya ka o were ọsọ gafee n'azụ owere dị n'azụ ụlọ be ya, rịa ukwu ube dị ebe ahụ ka ọ chọọ akpa ido abụọ wetara ya. Nwodibo ya ahụ tipu ọsọ ozigbo chọrọ ihe ọ gwara ya gawa.

Ka ọkọ ahụ na-agbaka Nwọhịa na Okechi na-eme ka ọ ga-adatụ ha jii, nwodibo ya ahụ buru akpa ido abụọ wụchaa n'ihu Eze Ụzọemezie. Eze kelee ya, gwa ya ka o dowe ha n'ala ebe ahụ ọ nọ. O si n'oche ebe ọ nọ kulie were sị ụmụnwoke nọ ebe ahụ na ọ bụrụ na agadi nwaanyị siwe egheghị eghe, ha anọwa alaghị ala. Na kama ihe ha sinyere n'ọkụ agaghị eghe, kama nkụ ha gwụchaa. Ọ jụọ ha ma ha kwetakwara n'ihe o kwuru, ha sị ya gawa n'ihu n'ihe ọ na-eme n'ihi na ha kwụ ya n'azụ chịmchịm. Ata nọ na-ama Onwụha kwerikweri n'akụkụ ebe ahụ ọ kwụ were na-ekiri Nwọhịa na Okechi ebe ha na-ata ntụ ọkụ. Ya na uche na-eme ebe ahụ ọ nọ, ahụ ya niile na-ama ya jijiji, ọsịsịọ dechara akwa o yi n'ahụ maka ọ maara na ọ bụrụ na Nwọhịa na Okechi mechaa kpọọ ya aha, na ihe mere odu ga-emekwa ọgịnị. Eze Ụzọemezie gakwuru Nwọhịa na Okechi ebe ahụ ha tọgbọ were jụọ ha ma ha ekwetala n'ihe ahịa kwuru ka a tọpụ ha n'agbụ ma tụhapụ ha. Ha welite ihu ha elu lee ya anya

ma gbachịkwa ya nkịtị. Ike agwụchaala ha. Ike ikwu okwu maọbụ ibe akwa adịghịzi ha.

Ahụ ha niile azachaala aza. Ụtarị a pịara ha gbachara ha nnukwu akpụrụkpụ n'ahụ ha niile. Ihu ha na anya ha zachara aza hara ka mbubo. Ọbara bụzi ọsịsịọ si ha n'ahụ apụta. N'ezie, Nwọhịa na Okechi ka e ji mara na ebe ọnwụ dị tere aka. Eze Ụzọemezie jụọkwa ha ọzọ ma obi ọ daala ha ka ha kwupụta uche ha. Naanị ihe ha jisi ike zaa Eze Ụzọemezie bụ na ihe ọbụla a na-eme ha bụ na nkịtị ka a na-eme ha ya n'ihi na ọ dịghị ihe ha maara ha ga-ekwu banyere Ọhahụrụ. Ọchọ ihe anaghị akwụsị ịchọ ihe naanị ma ọ chọtara ihe ọ na-achọ. Eze Ụzọemezie kpọpụta otu nwokorọbịa sị ya were akpa ido abụọ ahụ yọsachaa Nwọhịa na Okechi n'ahụ ha niile n'otu n'otu. Ị chọọ ihu eze agadi nwaanyị, i nye ya mmanya gbara ụka. Ị chọkwaanụ ịhụ ọchị nkịta, i nye ya ji dị ọkụ. Ozigbo a tọpuchara akpa ido ahụ ghasachaa ha n'ahụ, ka Nwọhịa na Okechi ji mara na ọ bụrụ na ugwu mụta a rịkata ya ọ gbajiwe ukwu, agadi

nwaanyị amụta ọ rịkata ya o zutu ike. Mgbe ido ahụ rịbachara ha n'ime ahụ ha niile wee bido mewe ha ihe e jiri zite ha, ka ebelebe gburu ibe ya. Ha bere akwa, bee akwa, tikuo nne ha, tikuo nna ha, ọ dịghị onye ruru ha aka n'ihi na agadi nwaanyị na-agba afa, na-achụ aja, ọ hụrụ ndịmmụọ n'ebee. Ido takatara ha, ha ruo obodo ndịmmụọ na ndụ lọghachikwa, maka ọ bụrụ na ido tawa gị, i tichapụghị ya maọbụ tigbuo ya etigbuo, ọ tanye gị nzuzu n'ahụ. Mgbe ha hụrụ na ido chọrọ ịtagbu ha pịị, ha were olu mkpu kpọọ Eze Ụzọemezie rịọ ya ka ọ tọghepụ ha n'agbụ ka ha gwa ha eziokwu. Oge ha na-akpọ ya ka ha na-atụgbu onwe ha n'ala n'ebe ahụ niile maka ido na-aga n'ihu na-akọwara ha ihe ha jiri bụrụ nwoke ọcha. Ihe ha riwere ọ gwụghị, ha anaghị ahapụ ya.

Eze Ụzọemezie were sị ha na nwa aṅụ na-agọ, nwa ebu na-agọ, naanị ihe ọ na-ajụ ha bụ gịnị gbakpọrọ nwa nkịta anya? Ọ gwara ha na ọ dịghị onye ọbụla ga-atọpụta ha n'agbụ ha nọ na ya ma ọ bụrụ na ha agwaghị

ha eziokwu. Na naanị ihe ha nwere ike ịnụ bụ ka ha kọọrọ ha ihe ha maara maka Ọhahụụ na onye ọzọ so ha were rụọ ya bụ ala. Eze Ụzọemezie mekwara ka ha mata na ido ahụ na-ata ha bụ ụtụ ka ha na-aracha. Na ọ bụrụ na e mechaa n'ikpeazụ ha agwaghị ndị Alaukwu eziokwu, na ọ ga-akara ha mma na ha nwụrụ anwụ karịa ịnọ ndụ hụ ihe a ga-eme ha ọzọ. Mgbe Nwọhia dikatara ihe ido na-ata ya n'ahụ, o kweghịzi ya edi, o tie mkpu kpọọ Eze Ụzọemezie sị ya, "Ọ bụ mụ na Okechi na Ọnwụha Ọgụdiru gburu Ọhahụrụ n'ime ịkpa ka o si ahịa alọta. Unu na-egbu anyị egbu unu egbuo anyị, ọ kaara anyị mma karịa anụ onwe anyị a unu na-enye anyị n'ọnụ n'ebe ugbua. Ọnwụ kaara anyị mma karịa ụdịrị ahụhụ a unu na-ata anyị ugbua."

Ozigbo o kwuchara ihe ahụ, aka kpara Ọnwụha Ọgụdiru n'egbughị oge ọbụla. Ha malitere gbaghebe ya ntị. E mere ya ihe niile ahụ e mere ndị otu ya mmaji kwuru mmaji, mkpu na-ada ebe niile. Ahụ ka ntị anụ ihe. Ụmụnwoke nọ ebe ahụ na-agba n'aka, na-

agbụpụrụ ihe ọjọọ asọmmiri n'ala. Mana ihe kacha were tụọ ha n'anya bụ ụdịrị obi Nwọhịa na Okechi nwere. Ọtụtụ n'ime ha sị na ọ bụrụ na e nyere ha iyi, ha aṅụchitere ha na aka ha dị ọcha banyere Ọhahụrụ. Ha amaghị na ndị ha na ha na-emekọ ihe liri obi n'azụ. Mana Eze Ụzọemezie mechara gosi ha na onye ha na-agbara afa ka ha bụrụ dibịa maka onye aghụghọ nwụọ, onye aghụghọ elie ya.

Ka Nwọhịa na Okechi kwetachara na ọ bụ ha gburu Ọhahụrụ, a tọpụchara ha ihe e kere ha n'aka ma n'ọkpa, kpụrụ ha ga kpọchie n'ịbarị ebe a na-akpọchi mmadụ na be Eze Ụzọemezie. A gụpụtakwara dimkpa ise ga na-eche ha nche. Ka a na-agbọ Ọnwụha ntị n'ọgbọ, a na-ajụkwa ya otu ha siri gbuo Ọhahụrụ. Ụmụokorobịa ewerelarị iwe na ọnụma kụpụ ya mkpụrụ ọkwụrụ n'anya n'ihi otu o siri gbachị nkịtị kemgbe, ọ chọghị ịkpọpụta onwe ya. Eze Ụzọemezie mechaa sị Ọnwụha ọ mara otu aka ya siri baa n'ogbugbu e gburu Ọhahụrụ, ọ gwa ndị

Alaukwu. Ọnwụha gwara ha na e butere ya iyi ya aṅụọ na ya amaghị ihe ọbụla maka Ọhahụrụ. Na Nwọhịa kpacha anya were kpọọ ya aha na o so ha wee gbuo Ọhahụrụ iji were rapụta ya. Obi adịghị Nwọhịa mma kemgbe ọ hụrụ na ya bụ enyi ya nwoke akwụnyeghịrị ya n'ihe ọjọọ o mere. Ọ bụ ya kpatara o jiri gụnye ya na o so ha were gbuo Ọhahụrụ ka ndị Alaukwu wee kpaa ya eze. Ọ sị ha, "Ọ dịghị mgbe mụ ga-ekworo na enyi m nwaanyị amaka mma wee rịa ube e doro iyi. Agaghị m ekworo na ihe na-adabara mụ na Nwọhịa were hapụ iso were mesie ya ike maka ụdịrị arụ ha kpara. Mana ugbua, Nwọhịa ekworola maka na mụ so ndị be anyị were na-eme ihe ha na-eme kpatara ha jiri chọọ imebicha aha m n'Alaukwu. Bikonụ, ọ dịghịkwanụ ihe ọbụla mụ maara n'etiti Nwọhịa, Okechi na Ọhahụrụ. Igbo kwuru okwu sị na ọ bụ onye maara onye na-egbu ya. Ọ bụ ya kpatara Nwọhịa ji were chọọ imemina m n'Alaukwu ugbua."

O nweghị onye nwere ike ịkọwa n'ezie maọbụ Ọnwụha bụ onye ahụ mezuru Nwọhịa na Okechi onye nke atọ n'ihi na Nzeka gbara ha ama enweghị ike ịkọwa maọbụ Ọnwụha bụ onye ahụ a na-ekwu maka ya ka ọ bụ onye ọzọ. Ọtụtụ ụmụnwoke nọ ebe ahụ na-ekwu na ọ ga-abụ Ọnwụha n'ihi ahịhịa juru n'ọhịa ebe agadi nwaanyị gara họrọ ọkazị. Ha na-ekwu na ọ bụghị naanị Ọnwụha bụ dimkpa bịara ije ahụ Nwọhịa hụrụ. Ụfọdụ na-akọwa na ebe Nwọhịa na Okechi mechara n'ikpeazụ kweta na ọ bụ ha nyụrụ ihe na-esi na o nwere ike ọ bụrụ agụgọ ka Ọnwụha na-agọ iji were zọrọ isi onwe ya.

Mana ụmụnwoke ndị obi umeala nọ ebe ahụ na-ekwukwa n'ụzọ nke ha na o nwere ike ọ bụrụ ajọ chi Ọnwụha kpatara Nwọhịa jiri saghee ọnụ kpọọ ya aha. Na o nwere ike ọ bụrụ na aka ya dị ọcha n'okwu ahụ. Mana ọ bụ onye na-ekwu, o were nwayọọ n'ihi na ọ dịghị onye ga-akọwa ihe dị na ngwungwu ma ọ bụrụ na a tọgheghị ya atọghe. Eze Ụzọemezie were kpọọ Ọnwụha ọzọ ọ zaa ya,

ọ sị ya na ọkụkọ sị na ọ na-atụgbu atụgbu tupu o loo. Na ọ ga-adị mma ka o kweta n'ihe a na-ajụ ya ka o mee ka ụzọ dị ogologo beere ha nkenke. Naanị ihe Ọnwụha sara ya bụ, "Ọ dịghị ihe ọbụla mụ bụ Ọnwụha nwa Ọgụdiru maara banyere ihe ahụ ị na-ajụ m. Unu na-egbu m egbu unu egbuo m. Kama marakwanụ na e gbuo nwogbenye ọ waa n'afa." A sị e nwude dimkpa n'ala o kwetaghị, a pịtọwa ya ọnụ o kweta.

Eze Ụzọemezie nye iwu ozigbo a malitekwa chiwe ya ọnụ n'ala ka a mara ma ọ ga-emecha were ọnụ ahụ o jiri sị mba na o soghị, were kweta na o so. E bidokwara n'isi mewe ya ihe karịa ihe ndị ahụ niile e mere Nwọhia na Okechi. Mana ihe ndị ahụ niile a na-eme ya dị ka a na-asụ mbazu n'ukwu ọjị. E mee ya elu, mee ya ala, naanị ihe ọ na-eti na mkpu akwa bụ "Esoghịkwa m ha! Esoghịkwa m ha!! Aka m dịkwa ọcha!!! Unu makwa ụma egbu m n'ihi na ọ dịghị ihe ọbụla mụ so Nwọhịa na Okechi were mee. Nwọhịa kpacha anya were kpọọ m aha na mụ

so ha were gbuo Ọhahụrụ. Aka m kwụkwa ọtọ n'ihi na ọ dịghị nke mụ maara banyere ọnwụ nwoke ahụ. Ihe onye ma, ọ mara ya. Ndị be anyị, ọ dịghịkwa nke mụ maara. Hapụkwanụ m! Esoghịkwa m ha!! Unu na-egbukwa m na nkịtị o o!!!. Nwọhịa mara ndị so ya were gbuo Ọhahụrụ, ọ kpọọ ha ugbua n'ihi na ọ na-akpọ m na nkịtị."

Ọ bụ otu a ka olu Ọnwụha si ada mgbe a na-agba ya ka aṅụ ka a mara ma a ga-esi n'ọnụ ya nụ eziokwu. O nweghị ụdịrị ahụhụ e nyeghị ya ka a mara ma ọ ga-ekweta n'eziokwu na ọ bụ ya na Nwọhịa na Okechi kpara nkata were gbuo Ọhahụrụ. Mana ahụhụ niile ahụ a na-ata ya dị ka a na-atụnye ogbe nnu n'oshimiri. Maka na ọ na-abụ e mechaa ya ihe niile a na-eme ya, ọ kwụrụkwa ebe ọ kwụ. Mgbe Eze Ụzọemezie hụrụ na mbọ niile ahụ a gbara ịjụpụta ya eziokwu n'olu bụ ihe lara n'iyi, o si n'oche ebe ọ nọ kulie baa na be ya ga weta ogologo ntu abụọ na otu obere mkpume. Ọ chịrị ha gaa ebe ahụ Ọnwụha tọgbọ n'ala, were ntu ndị ahụ gosi

ya were sị ya, “Ịkpọ gị ntu n’isi na ikwu eziokwu, were otu.” Ndị obodo dụnyechara aka n’agba na-ele ha ka ha mara ihe bụ uche onye ara. Ọnwụha were nwayọọ saghee anya ya anyammiri jupụtara na ha were sị Eze Ụzọemezie na ọ kaara ya mma na a kporọ ya ntu ndị ahụ n’isi ka ọ nwụọ karịa na a hapụrụ ya were na-ata ya ahụhụ ndị a na-eme ya ka o were anya ya na-ahụ ọnwụ ya. Ọ bụghị mmadụ daa elu, mkpumkpu apụọ onye ọzọ n’azụ. Ọ gaghị ekworo na ụnwụ dị were sị na isi ede dị ka isi nne ya. Tụfịakwa! Ọnwụha egosipụtala na dimkpa nwere ndị ka ibe ha enwe obi. Oge o kwuchara ihe ahụ, ike gwụ Eze Ụzọemezie, gwụ ndị so ya n’azụ. O wee chịrị ntu ahụ na mkpume ahụ wụsa n’ala were nye ụmụokorobịa iwu ozigbo ka ha kpụrụ ya ga kpọchie ebe a kpọchiri ibe ya n’ihi na okwu ha na ya ebibeghị.

Eze Ụzọemezie were kulie kelee ọha na eze ndị Alaukwu nọ na mbaraezi be ya otu onye ọbụla n’ime ha siri nwee ndidi kemgbe ụzọ ụtụtụ e ji ọkpa were na-achọ ihe danyere na

mmiri. O were sị ha na ọ bụ ya bụ ihe ahụ a na-asị na ọ bụrụ na nwata mụwa elu, nne ya amụwa akwa n'ihi na onye ọbụla n'ime ha ahapụla ihe o nwere ụbọchị ahụ were nọdụ ka ha lụso ihe ọjọọ ọgụ, maka na ọ bụ anya bewe, imi ebewe.

Ọ sị ha, "Ugbua, o doro anyị niile nọ ebe a anya na ọ bụ mmadụ abụo ka anyị jigodu n'aka gburu Ọhahụrụ. Ọnwụha bụ onye anyị amabeghị ma o so, ka ọ bụ na o soghị. Igbo kwuru okwu sị na ọ bụ a nyụkọọ amịrị ọnụ, ọ gbọọ ụfụfụ. Onye ọbụla n'ime unu maara otu anyị na ndị Ụmụnka ga-esi gaa echi o kwuo. Nke ọzọ bụ onye marakwa ihe ọzọ anyị na Ọnwụha Ọgụdiru ga-eje, ọ kọwapụtara ọha na eze nọ ebe a, n'ihi na a sị na isi naabọ dị mma ka otu isi, mma. Bikonụ ụmụnne m, onye mara ezigbo aro ọ ga-atụpụta ugbua ya biko pụta gwa anyị n'ihi na dimkpa ejighị etito toro ya n'ike akpa nganga. Unu anwụchula."

Ozigbo Eze Ụzọemezie kwuchara okwu nọdụ ala, otu nwoke a na-akpọ Ọhaekwe welie aka ya elu ka o kwuo okwu. Nwoke a bụ Ọhaekwe so n’okenye tọchara Alaukwu niile. O kulie were sị ha,

“Alaukwu kwenụ o”
“Ya a a!”
“Ndị nwe m kwenụ o”
“Ya a a a!!”
“Ụmụnne m na Ụmụnna m kwezuonụ o o”
“Ya a a a!!!”

“Ụmụnne m, ndị mụ jiri biri, okenye anaghị anọ n’ụlọ ewu amụọ n’ọgbịrị. Onye hụrụ ihe ọjọọ kwupụrụ ala ka ala hapụ ịchụ ya ọsọ. Ndị be anyị jizi ime arụ wee mere akaọrụ. Kama ọkụkọ tụpuo ọnụ erugheru, ya agbakwala ọsọ maka ọ bụ ihe onye ọbụla zakọlatara, o kpochaa ya. Tupu mụ kwuo ihe ọbụla, aga m eji ohere a kelee onye na-achị anyị bụ Eze Ụzọemezie otu o siri were ezigbo akọ na uche Chukwu nyere ya were soo okwu a. Nke a egosila anyị na ọ bụ otu

onye a na-asị ‘unu abịala’, dike a na-akpa ogwu n’anya”.

“Ọ bụ Chukwu wepụtara ya ka ọ chịwa anyị. Ana m arịokwuazị Chineke ka Ọ na-anọnyere ya mgbe ọbụla ma na-enyewanye ya ezigbo ọgụgụ isi ọ ga-eji were na-edu anyị maka onye ọbụla na-achị achị enweghị ezigbo uche zuru oke na amamihe nke ụwa, bụ nnukwu ihe ihere ka ọ bụ n’ebe ndị ọ na-achị nọ. N’uche nke m, ọ bụrụ na ndị Ụmụnka bịa echi sị kpurụ Nwọhịa na Okechi kpụnye ha n’ihi na ọ bụ isi ka e ji akwụ ụgwọ isi. Ihe ọ masịrị ha, ha were ha mee, maka ọ bụghị onye meta ihe, onye ọzọ ataara ya ahụhụ ya. Anyị ga-agwakwa ha ka ha were obi umeala were ihe otu ha siri hụ ya ma kwekwa ha nkwa na ihe bere mbụ agaghịkwa ebe ọzọ. Agaara m asị ka anyị hapụ Ọnwụha mana ebe ọ bụ na Nwọhịa kpọrọ ya aha na o so ha, ọ na-agọ agụgọ na o soghị, anyị agaghị esi otu ahụ hapụ ya. Mana ebe ọ bụ na anyị esila otu ụzọ soo ya, o kwetaghị, anyị ga-esi ụzọ ọzọ soo ya. Ọ bụrụ na anyị mechaa

n’ikpeazụ chọputa na aka ya dị ọcha dị ka o siri kwuo, anyị ahapụ ya n’ihi na o nweghị uru ọ bara igbu onye o nweghị ihe o mere. Ọ dị m ka ihe anyị ga-eme bụ ịkpọrọ ya gawa n’agbara Dagburu ka agbara kọwaara anyị ihe anyị amaghị. Ọ bụrụ na unu kwetara n’ihe a mụ kwuru, unu amara na tupu anyị agbasaa ebe a, anyị ga-agụpụta dimkpa anọ ahụ zuru oke ka ha ga kwado ozigbo kpọrọ ya gawa Dagburu n’etufughị oge ọbụla maka anaghị egbu mbekwu edowe ọra ebe a maara na ndị nze na ọzọ agaghị eso rie ya. Ọ gwụlanụ ka ọ ha m n’ọnụ. Udo dịrị onye ọbụla. Ka Chukwu dubenụ anyị.”

Ozigbo o kwuchara okwu, umụnwoke niile nọ ebe ahụ na-ekele ya, na-etu ya aha e jiri mara ya n’obodo, ***‘Agbakpọdikeizu’***, ***‘Agbakpọdikeizu’*** ijiri gosipụta na ha nabatara ezigbo aro ọ tụpụtara.

Eze Ụzọemezie tuo Ọhaekwe ***‘Agbakpọdikeizu!’*** Ọhaekwe wee zaghachi ya, ***‘A gbaa ya ugboro abụọ’*** Onye ọbụla

dapụ n'ọchị. Eze Ụzọemezie ga kwee ya n'aka, kelee ya maka ezigbo okwu o kwuru. Eze Ụzọemezie jụọ ha ma o nwere onye ọzọ nwere ọnụ ọ ga-etinye na ya bụ okwu. Ha niile sị ya mba na o nweghịzi ihe ọzọ ha ga-atụkwasa n'okwu ahụ Ọhaekwe kwuru n'ihi na okwu ọma adịghị mma ọsụsa. Ha sị a mara ihe ọzọ a ga-eme sị mee n'ihi na Agbakpọdikeizu ekwuchaala ihe ha ga-ewku. Eze Ụzọemezie kelee ha were sị ha họpụta dimkpa anọ ahụ ga-akpọrọ Ọnwụha gaa ije ahụ. Ha were họpụta Ọnwụajụase, Ikebụọnwụ, Ọnwụka na Ọgụagbaka. Mmadụ anọ ndị a ha họpụtara bụ ụmụokorobịa ndị gbara dimkpa na-atụ egwu n'Alaukwu. Onye ọbụla zuru ha n'ụzọ na mberede ga-agbarịrị ọsọ ndụ ya. Dimkpa anọ ahụ so na ndị izizi a ga-akpọ aha ma a bịa n'ihe e ji ọkpụkpụ aka eme n'Alaukwu. Ọ bụ ha na-eburu ndị be ha ụzọ ọgụ ma ọgụ dapụta. Ndị be ha na-akọwa na ọ bụ otu ọkpụkpụ na otu akwara ka Chineke nyere ha ha jiri sie ụdịrị ike ahụ ha siri. Onye ọbụla maara ha nke ọma na-arịọ chi ya ka okwu ghara isere ya na onye ọbụla

n’ime ha. N’ime ha anọ, Ikebụọnwụ na Ọgụagbaka bụ nnukwu ndị dinta e ji ama atụ n’Alaukwu. Ha na-eji egbe ha agbatu ihe a naghị ahụ anya. Ebe ọ sọrọ anụọhịa nọrọ, ha agbara ya ihu kpuo n’ala.

Oge a họputachara ha, Eze Ụzọemezie were gwa ha na ha ga-alarucha na be ha n’otu n’otu were kwadoo otu ha ga-esi gaa Dagburu. Ụtụtụ echi, ha akwadoo soro ibe ha pụta. Ọ bụrụ na ndị Ụmụnka bịachaa laa, ha akpọrọzịa Ọnwụha Ọgụdiru gawazịa Dagburu maka onye ụlọ ya na-agba ọkụ anaghị achụ oke.

Ọ bụghị na ọ na-agbagha okwu ahụ Ọhaekwe kwuru kama ọ ga-adị mma ka ha niile nọrọ wee mara ihe bụ uche ndụ Ụmụnka. Eze Ụzọemezie kwukwara na Nzeka ga-eso mmadụ anọ ahụ a họpụtara n’ihi na ọ bụ ya ga-anọchite anya ya ma bụrụkwa onye ga-eduru ndị ọzọ gawa ya bụ ije. Ọ gwara ha ka ha họpụtakwuo mmadụ ise ndị ọzọ ndị ga-emezu ndị nke mbụ a họputara na-eche

Nwọhịa na ndị otu ya nche, mmadụ iri. O kwuru na ọ bụ mmadụ iri ahụ ga-eche ha nche tutu rukwaa echi. Ọ sị ha enyela nsogbu maka ihe oriri ha ga-eri na ọ bụ ya ga-ahụ maka ihe ha ga-eri na nke Nwọhịa, Okechi na Ọnwụha ga na-eri rukwaa echi. Ọ gwara ha niile ka onye ọbụla gbakwaa mbọ bịaghachikwa na be ya n'ụzọ ụtụtụ echi ka ha na ndị Ụmụnka were hụ ihu na ihu, maka ọgba ọsọ anaghị agbadebe ọsọ naanị ma ihe na-achụ ya ọ chụdebere ya.

Oge ọ gwachara ha okwu ahụ, onye kwuru okwu ebe ahụ bụ Alagbaọsọ n'ihi na ọ bụ naanị ofeke amaghị ihe ọ ga-ekwu na-asị na ibe ya ekwuchaala ihe ọ chọrọ ikwu. Ọ jụrụ ndị be ha ajụjụ na ọ bụrụ na o ruo echi, ndị Ụmụnka bịa, were jụ na ha agaghị akpọrọ Nwọhịa na Okechi na ọ bụ nwa ha bụ Ọhahụrụ ka ha chọrọ, kedụnụ ihe ha ga-eme? Eze Ụzọemezie were sị ya, "Ọ bụrụ na ndị Ụmụnka jụ na ha agaghị akporọ ndị gburu nwa ha anyị ga-akpọnye ha, anyị amara na anyị ejiderela ha ọfọ. Ihe ọbụla ha chọrziri,

anyị enye ha maka na ekwukata nwa m anwụla, nwa m anwụla, na abọ adịghị, otu ụbọchị a sị nwa m nwụọ n'ihi na ọ bụrụ na abọ adịghị n'ụlọ, ọ dị n'ọhịa. Ihe ọbụla ha tụrụ anyị n'ahịa, anyị azụtara ha ya maka ọ bụghị nkịta richaa nsi, eze eree ewu. Ndị mụ hurụ n'anya, eji m aka na unu kwụ m n'azụ n'ihi na onye nna ya dunyere ohi na-eji ọkpa agbọwa ọnụ ụzọ." Ha sị ya gawa n'ihu n'ihe ọbụla ọ na-eme n'ihi na ha kwụ ya n'azụ.

Ka ha kwuchara okwu ndị ahụ, ndị a gụpụtara ga-eche ndị omekome ahụ nche gaa chebido ha, ndị ọzọ gbasaa lakwuru ezinaụlọ ha were na-eche ka chi fo ka ha mara ebe agwọ uchichi dowere isi ya.

Tupu ha na-alarụ n'ụlọ ha, akụkọ banyere Ọhahụrụ ewusaala ebe niile. Ebe ọbụla a kpọrọ Ọhahụrụ aha, ndị ọzọ a ga-akpọ ga-eso ya abụrụ Nwọhịa, Okechi na Ọnwụha n'ihi na ọ bụ ejula gawa, ọ kpụrụ okiriko ya. Ụmụnwaanyị na ụmụaka jizi aha ha were mere akụkọ ifo. Ụfọdụ na-ekwu na e ji mma

bepụchaa ha isi. Ụfọdụ na-ekwu na ha nụrụ na e liri ha na ndụ na be Eze Ụzọemezie. Ebe ụfọdụ sị na a hapụgoduru ha were na-eche ma a ga-akwụgbu ha akwụgbu, maọbụ ịkpọ ha ntu n'isi ga-aka mma. Nke kacha nke bụ na ha na-ekwu na ọnwụ Ọhahụrụ ahụ na-achọ ibute nnukwu ọgụ n'etiti ndị Alaukwu na ndị Ụmụnka. Ha kwuru na ọ bụ otu a ga-esi lụọ ya bụ ọgụ ka ụmụnwoke ha na-ekwu maka ya kemgbe na be Eze Ụzọemezie. Akụkọ niile gbasara Ọhahụrụ na ndị gburu ya mere ka nwunye Okechi na Ọnwụha kwara ngwongwo ha, kpọrọ ụmụ ha gbalaa na be nna ha n'otu n'otu. Ha kpọkuru ala Alaukwu, bee akwa, kwuo na ọ dịghị nke ha na ụmụ ha ma, nke onye metere, o were isi ya buru. Na ọ bụkwa ije di ka ha bịara.

Mana mgbe eziokwu gbasara ihe ndị ahụ na-ahịọ n'obodo ha jiri see n'elu bụ mgbe ụmụnwoke gbasara nzukọ ha gara kemgbe na be Eze Ụzọemezie. Ọ bụ oge ahụ ka ụmụnwoke kọwaara ndị nwunye ha na ụmụ ha ihe na-akpọtụ, otu e siri soo ya, na ebe ya

bụ okwu jedeberela. Ebe niile dara jii n’Alaukwu ụbọchị ahụ niile. Ọ dịghị ebe a nụrụ kefum mmadụ maka ọ dịghị onye ga-anụcha ihe ahụ na-ahịọ, nwee ọnụ okwu.

## Isi Nke Anọ

## IHE ONYE METERE O WERE ISI YA BURU

Igbo kwuru okwu sị na ọ na-abụ a maa atụ ike ọ dị ka ọ dị n’Oru, mana ọ bụ e wefee aka n’azụ e metụ ya. Ụbọchị ndị Ụmụnka gwara ndị Alaukwu na ha ga-abịa kpọrọ nwa ha bụ Ọhahụrụ awụchaala. Tupu chi na-efo nke ọma ụbọchị ahụ, ụmụnwoke niile nọ n’Alaukwu amachiela na mbaraezi Eze Ụzọemezie wee chere ndị Ụmụnka. Ubọchị ahụ bụ ụbọchị Afọ Alaukwu, ọ dịghị onye a hụrụ na ya bụ ahịa. Ndị Alaukwu niile adịghị onye egwu kwere gaa ahịa maka na ọ bụ ihe dịrị ọkụkọ mma ọ tụchawa onwe ya. Ndị mmadụ si ebe dị iche iche abịa ahịa n’Afọ Alaukwu bata jụo ihe kpatara Afọ jiri tọgbọrọ chakoo, a kọchaara ha, ha ewere ọsọ na ịtụ egwu laghachikwa na be ha ka ihe mere ọkụkọ ghara ime ọkwa. Ha na-ala, ha ana-agwa ndị nke ha na-ezute n'ụzọ bu ngwa ahịa aga ahịa ihe ha nụrụ, ndị nke ahụ atụgharịa soro ha lawa n’ihi na ọ bụ naanị osisi nụrụ na

a ga-egbu ya were kwụrụ ebe ọ kwụ. Ahịa Afọ ụbọchị ahụ dị ka ebe a na-eli ozu. Ebe niile dara jii.

Nwantakịrị oge n'ụtụtụ ahụ, ndị Ụmụnka mmadụ itoolu, tinyere Udenkwo mezuru ha dimkpa iri Nze Iyiegbu zitere, zọchie na nke Eze Ụzọemezie. Ha niile kocha egbe, turuchaa mma n'ukwu ha n'otu n'otu. Ozigbo ha batara, ha hụrụ ụmụnwoke ndị Alaukwu ka ha wụsacha na mbaraezi Eze Ụzọemezie were na-eche ha ka ha bịa, mana egwu ọbụla atụghị ha n'ihi na ha maara na onye ọbụla na-achọ nke ya anaghị eme ajọ ihe. Ihe kacha were kaa ha obi ma mee ka obi ha bụrụ gem bụ maka na ọ bụ naanị ugboro abụọ ka ekwe na-akpọ dike, ọ kpọọ ya na ndụ, ọ kpọọ ya n'ọnwụ. N'ihi na ọ bụrụ na isi nwoke adaghị n'ala, o koro n'elu.

Ha bata nọdụ ala were anya na-agwa onwe ha okwu n'ihi na ha amaghị uche ndị ha ji n'ala. Ndị ha ji n'ala amaghịkwa uche ndị ji ha. Eze Ụzọemezie na ndị Alaukwu nabatara

ha nke ọma mana dimkpa iri ahụ kere ezigbo nkwụcha were chebiri ihe ọbụla nwere ike ịdapụta n'ihi na nkwụcha abụghị ụjọ. N'etufughị oge, Udenkwọ si ebe ọ nọ kulie, kelee mmadụ niile nọ ebe ahụ were sị Eze Ụzọemezie, "Agwọ anyị na gị gburu ọ dị mkpirisi ole? Ọ bụ Ọhahụrụ ka Nze Iyiegbu zitere anyị ka anyị bịa kpọta. Biko, nna anyị ukwu, naanị ihe ọma unu ga-emere anyị bụ ịkpọpụta ya kpọnye anyị. Unu nwekwara ike gwa anyị ebe anyị ga-eje kpọrọ ya. Ọ bụrụkwanụ na ọ nọghịzi ndụ, unu emee ka anyị mara, ka anyị wee mara ebe anyị jkwụ ma marakwa nke anyị na-eso. Bikonụ ụmụnne m, a mara otu a ga-esi kpọọ okwu aha sị kpọọ ya ka anyị lawa n'ihi na ndị be anyị nọ n'ụlọ na-eche anyị ka anyị kpọrọ Ọhahụrụ lọta Ụmụnka. Ekele dịrị unu."

Okwu a Udenkwọ kwuru wutere nwoke ọbụla bụ onye Alaukwu nọ ebe ahụ n'ihi na Ọhahụrụ ha na-ekwu maka ya abụrụla onye nwụrụ anwụ kemgbe, mana otu anya dịla, a ga-elerịrị ya ele. Eze Ụzọemezie kelee ha

maka ije ha bịara, were buru ụzọ kọwaara ndị Alaukwu na onye ahụ kwuru okwu n'aha ndị Ụmụnka bụ ya tọrọ Ọhahụrụ n'afọ nne na nna. Ọtụtụ n'ime ụmụnwoke ndị Alaukwu mara ọsụ ozigbo Eze ha kọwachaara ha onye Udenkwo bụ, iji were gosipụta obi obere ha nwere banyere ọnwụ Ọhahụrụ. Eze Ụzọemezie sịrị ndị Ụmụnka ahụ bịara na nke ya maka nwanne ha nwoke, "Ụmụnne m, onye ọbụla ihe ya furu, ọ chọwa ya o meghị ihe ọjọọ. Ọ dịghị ụta ọbụla mụ na ndị obodo na-ata unu maka nwanne unu nwoke unu chọọrọ bịa, maka ọ bụrụ onye nke anyị, anyị ga-achọ ya. O nweghị mmadụ Chukwu kere eke ọ ga-atọ ụtọ ma ọ hụkata onye nke ya were mechaa kwụsị ịhụ ya. Ihe mere ugbua bụ na anyị niile nọ ebe a adịghịzi onye bụ nwata.

Ọ dịbeghị ihe anyị anụbeghị na ntị. Ọ dịbeghịkwa ihe anyị ejibeghị anya anyị were hụ n'ihi na akịdị abụghịziri ngwere ihe ọtịta mbụ. Ọ dịghị ihe ntị nụrụ chie ma ọ bụ ihe anya hụrụ kpọọ. N'ihi ya, otu ọbụla unu siri

hụ ụwa, unu ewere ya. Anyị emechaala nnyocha niile anyị nwere ike ime maka Ọhahụrụ were chọpụta na Ọhahụrụ anwụọla. Anyị mechara chọputa na ọ bụ ndị mmadụ gburu ya n'ụzọ ka ọ na-alọta ahịa mana anyị na-ekele Chukwu na aka anyị kpaara ndị ahụ gburu ya. Mgbe ọbụla unu jiri lawa, anyị akpụrụ ha kpụnye unu, ihe masịrị unu, unu ewere ha mee. Ọ baghị uru ịkọwara unu otu Ọhahụrụ siri nwụọ maka i mewe nke a ga-eme ka iwe na ọnụma unu dị ọkụ. Wetuonu obi. Sowenụ ụwa a otu o siri dowe ihu."

Oge Eze Ụzọemezie kwuchara okwu, ihe ndị o kwuru gbara Udenkwọ ka aṅụ. Nnukwu mwute bịa ya n'obi. Ọsịsịọ zuo ya ahụ niile. Ọ dị ya ka ọ bụ asị na nwanne ya nwoke bụ Ọhahurụ nwụrụ anwụ, na ọ bụ mmadụ gburu ya. Ọ kpọhulata isi ya n'ala, o kweghị ya edi. O bulite ya elu, anyammiri jupụta ya anya. O tiwaa mkpu akwa bewe, ndị ha na ya soro bịa ije ahụ jide ya ozigbo, gwa ya ka o mechie ọnụ ya were obi dimkpa sowe ihe ụwa maka na onye soo ụwa n'ike, ọ laa n'ike. Udenkwọ

hichaa anya ya ozigbo, kulie kelee Eze Ụzọemezie na ndị Alaukwu otu ha siri kpachapụ anya were soo okwu a gbasara Ọhahụrụ na otu ha siri mee nchọpụta were chọpụta ihe mere nwanne ha nwoke. Ọ sị ha, "Ndị be anyị kwuru okwu sị na ọ na-abụ a gawa agawa a kọtara Eze, a lawakwanụ alawa a ga-akọtakwara Eze. N'ihi ya, anyị ga-ala ka anyị ga kọọrọ ndị zitere anyị ihe anyị jetara. O wutere anyị nnukwu otu o siri bụrụ n'Alaukwu ka isi nwanne anyị nwoke tọrọ. Ọ bụ eziokwu na Ọhahụrụ anwụọla mana ana m ekwu na ọ ka nọ ndụ n'ihi na anyị agaghị esi otu ahụ chefuo ya."

"Unu kwuru na unu ga-akpọnye anyị ndị gburu Ọhahụrụ mana ọ dịghị mmadụ ole a kpụnyere anyị ga-adị anyị ka Ọhahụrụ maka na nke m bụ nke m, nke anyị bụrụ nke anyị. O wutere anyị nke ukwu otu ụfọdụ mmadụ siri chefuo mmekọrịta dị n'etiti anyị na ndị Alaukwu were nwee obi igbu otu onye n'ime ndị Ụmụnka ji eje mba. Kama nsogbu ọbụla adịghị ya n'ihi na nwa ewu ọbụla tiwara ite

ga-anyarịrị akịrịkọ eju n'olu. Ọbịara ije nwe ụla. Anyị ga-alaghachi Ụmụnka ugbua ka ndị be anyị hụ anyị ka ha marakwa na ihe mere mmaoge emebeghịkwa mbazụ. Anya ndị be anyị niile tọrọ n'ezi ugbua. Ha na-atụsi anya anyị ike maka ha amaghị ma ihe gburu nnekwu ọkụkọ ọ ga-achịrịkwu ụmụ ya na ndụ."

Ozigbo Udenkwọ kwuchara okwu, Eze Ụzọemezie nye iwu n'aka ọkụ ka a kpụpụta Nwọhịa na Okechi kpụnye ha. Ọ gwara ndị Ụmụnka na ọ bụ eziokwu na Ọhahụrụ anwụọla, na ọ dịghị onye maọbụ mmadụ ole a kpụnyere ha ga-adị ha ka ya, kama ha ghọtakwa na o kwesịrị ka mmụọ e jiri akwa ọkụkọ chụrụ aja marakwa na aka na ọkpa ọkụkọ dị n'akwa ahụ. Ndị ahụ na-eche ha nche ga kpụpụta ha, were ụdọ kefee ha aka n'azụ n'otu n'otu. Ha tiri mkpu akwa metụtara onye ọbụla nọ ebe ahụ n'obi ozigbo a kpụpụtara ha n'ihi na ha chere na ọ bụ ogbugbu ka a na-achọ ka a kpurụ ha ga gbuo n'ime ịkpa. Mana, ọ na-abụ aka kpara

ekperima, egwu abaa ya ahụ. Mana Eze Ụzọemezie gwara ha ka ha wetuo obi n'ihi na ọ dịghị onye ga-emetụ ha aka. Na naanị ihe kpatara e jiri kpọpụta ha bụ ka ha soro gaa Ụmụnka gaa rịọ ha mgbaghara maka nwa ha nwoke ha gburu. Ha jechaa Ụmụnka lọghachi Alaukwu, a hapụ ha. Ọ bụ naanị mmanụ ka i nwere ike ịkọrọ onye isi na ọ dịghị n'ofe, ị gaghị akọrọ ya na nnu maọbụ azụ adịghị ya. Ha ekwetaghị n'ihe ahụ Eze Ụzọemezie gwara ha n'ihi na àmà anaghị agba n'ihe anya hụrụ

Mana, Nwọhịa na Okechi mechara kasie onwe ha obi na ha ga-eso ha gaa ebe ọbụla ha chọrọ, n'ihi na ọ bụrụ na nwoke anwụghị anwụ, ọ nọrọ ndụ. A naghị anwụ ugboro abụọ. Ọ bụ onye nwụọ, nke ya agaa. Mgbe obi jiri datụ ha jii bụ oge ndị Ụmụnka kpụ ha ala, ụmụnwoke ndị Alaukwu soro ha. Nwọhịa na Okechi amaghị ebe a na-aga kama naanị ihe ha maara bụ ebe ọkụ norọ nyụọ, ha awụsa ọwa. Mana mgbe ha ji mara na ijiji eberela n'azịza a ga-eji gbuo ya bụ oge ndị Alaukwu dururu ndị Ụmụnka

n’agbata ha na ndị Ụmụnka, ha feere ndị Ụmụnka aka, werekwa nwayọọ laghachi na be ha.

Ka Nwọhịa na Okechi hụrụ ndị be ha ka ha hapụrụ ha laghachi azụ, ha bido tiwe mkpu akwa onye ọbụla nọ n’ịkpa ụbọchị ahụ nụrụ. Udenkwọ baara ha mba ka ha mechie ọnụ gawa ebe ha na-aga n’ihi na ọ dịghi onye ga-emetụ ha aka. Ha amaghị na akwa ọkụkọ na-ebe bụ akwa o ji ala mmụọ. Aka akparala eze udele, ha ruo Ụmụnka, ha akọwara ha ndịmmụọ chiri ha eze. Oge ndị Alaukwu laghachiri, ndị Ụmụnka kpọrọ Nwọhịa na Okechi dowe n’etiti ha, sị ha gawa na ha chere ha nche n’ihi na ha agaghị ekwe ka mmiri baa ha ntị. Nwọhịa na Okechi gaa, gaa, ha elee anya n’azụ ka ha mara mgbe ọnwụ ga-egbu ha ga-abịa, n’ihi na ọnwụ na-abịa na mberede.

Ozigbo ụmụnwoke Alaukwu lọghachitara na nke Eze Ụzọemezie, Ọ gwara Nzeka na mmadụ anọ ndị ọzọ, Ọnwụajụase,

Ikebụọnwụ, Ọnwụka na Ogụagbaka ka ha kwado kpọrọ Ọnwụha Ọgụdiru gawa n'agbara Dagburu. Ọ gwara ndị na-eche Ọnwụha nche ka ha kpọpụta ya. Oge a kpọputara ya, uche ya bụ na ọ bụ ka a ga gbuo ya otu e siri gbuo Nwọhịa na Okechi kpatara e jiri kpọpụta ya.

Mgbe a bịara kpụrụ Nwọhịa na Okechi, Ọnwụha chere na ọ bụ ogbugbu ka a na-aga igbu ha. Mana otu o siri dị iche na ha bụ na mgbe a kpọpụtara ya, ọ dịghị akwa ọbụla o bere, Anya ya na-eti gbaa ka etiti ehihie, obi ya sie ike dị ka mkpume. Ọ dịghị egwu ọbụla na-atụ ya n'ihi na ọ sị na ọ maara na mekwaa elu mee ala, na igwe niile ga-agarịrị n'ụzụ. Naanị okwu o kwuru mgbe ọ pụtara bụ, "Unu na-egbukwa m na nkịtị. Ọ dịghịkwa ihe mụ maara banyere Ọhahụrụ." Eze Ụzọemezie were sị ya, "Ọnwụha Ọgụdiri, Alaukwu anaghị achọ onye ha na-egbu. Mana onye ọbụla tara anyị arụ n'isi na-asọghị ụbụrụ, anyị ga-ata ya n'ike, anyị agaghị asọ nsị. Nwọhịa kpọrọ gị aha na i so ha were gbuo

Ọhahụrụ, mana kemgbe e jidere gị, ị na-agọ agụgọ na-agọsị ike na ọ dịghị ihe ọbụla ị maara maka Ọhahụrụ. Ndị nna nna anyị ga-ata anyị ụta dị egwu, ala Alaukwu ga-agbakwuru gị ọgụ anyị ga-azọ isi anyị azọ na ya ma ọ bụrụ na anyị egbuo gị ebe ọ dịghị ihe ọbụla i mere. N'ihi ya, anyị bụ ọkụkọ ga-atụgbu atụgbu tupu anyị eloo. Anyị ga-ajụ ase nke ọma tupu anyị erie. I ga-eso ndị a ga-akpọnye gị gaa Dagburu ka a gaa jụta agbara ma aka gị ọ dị ọcha n'ezie n'ọṅwụ Ọhahụrụ ka ọ bụ aghụghọ ka ị na-aghọ. Ọ bụrụ na e mechaa chọpụta na ọ dịghị ihe ọbụla i mere, anyị ahapụ gị n'ihi na ọ dịghị uru ọ bara bụ imegbu mmadụ Chukwu kere eke. Mana ka mụ jụọ gị, ị chọkwara iso ha gaa n'agbara Dagburu ka ọ bụ na ị chọghị, n'ihi na ihe a na-aṅụchitere dicohi bụ mmanya, a naghị adachitara ya elu." Ọnwụha zaa ya, "A naghị ajụ oke ma ọ ga-erikwa azụ. Ebe ọbụla unu chọrọ ka anyị gaa, aga m eso unu gaa n'ihi na ọ bụ onye metera ihe ụjọ ka ụjọ na-atụ.

Igbo kwuru okwu sị na ọ na-abụ a chọwa ijide oke ehi, a chọwa oke mmadụ. Agbara Dagburu bụ nnukwu arụsị mba dị iche iche maara maka ya. Agbara a mere obodo a bụ Dagburu ọ na-ewu ewu. Ihe e ji akwanyere arụsị ahụ bụ agbara nnukwu ugwu pụrụ iche bụ maka o nwee onye ọbụla mere ihe were na-agọ agụgọ, a kporọ ya ruo ebe ahụ, arụsị ahu bụ agbara akpọọ onye ahụ aha, kọwaa na ọ bụ ya mere ihe ahụ. Ọ bụrụkwanụ na ọ bụghị onye ahụ, o kwuo na ọ bụghị ya. Ọ ga-ejikwa nwayọọ kpọpụta aha onye maọbụ ndị mere ihe ahụ. Ndị maara ya nke ọma na-asọ ya asọ maka onye ọbụla gara ebe ahụ anaghị akọchanwu ihe ọ hụrụ.

Eze Ụzọemezie kpọọ Nzeka were gwa ya na dimkpa anọ ndị ọzọ, ka ha kpọrọ Ọnwụha gawa Dagbruru. Ọ sị Nzeka na ọ bụrụ na ha ruo Dagburu, ka ọ gwa eze na-achị ndị Dagburu bụ Ọzọ Uruagwụ na ọ bụ ya zitere ha, ka o nyere ha aka site n'ịhụ na ihe ha ji maka ya were bịa gara werewere. Ọ dụrụ ha ọdụ na ọ bụrụ na Ọnwụha pụta n'ụzọ chọọ

ịgba ọsọ maọbụ imesi ha ike, ha gbuo ya lọtawa maka kama mmiri ga-eri isi ha, ya rie okpu ha. Eze Ụzọemezie gwakwara Ọnwụha na naanị ihe ọma ọ ga-emere chi ya bụ ka o were nwayọọ soro ha gaa n’udo ma sorokwa ha lọghachitekwa n’udo. O mechaa kpọpụta Nzeka na dimkpa anọ ndị ahụ n’akụkụ were sị ha na ọ bụrụ na agbara kọwaa na Ọnwụha soro gbuo Ọhahụrụ, ọ jụ na ọ gaghị esoro ha lọghachite, ha kee ya agbụ buru ya n’isi lọghachite Alaukwu. Mana ọ bụrụ na o nyee ha nsogbu n’ụzọ ka ha na-eje eje, ha gbuo ya lọtawa, ọ dịghị iwu ọbụla ji ha. Eze Ụzọemezie gwachaa ha ihe ndị ahụ, ha kelee ya na ndị Alaukwu, kpọrọ Ọnwụha gawa Dagburu.

Dimkpa ise a kwadoro nke ọma maka ịga Dagburu ahụ. Ha niile kocha egbe, tukwunyechaa obejiri a mụrụ nke ọma n’ukwu ha n’otu n’otu. Ha maara na e nwere ike ịkọ ọgwụ kpatara ha jiri nyatachaa akpa, maka agha a kara aka anaghị eri nwa ngwụrọ. Nzeka bụ onye chị ụdọ Eze Ụzọemezie

chịnyere ha maka ijiri gosi Ọnwụha na dimkpa na-aka ibe ya ma ọ dawa njọ njọ. Ozigbo ha chọọrọ agbara Dagburu gawa, Eze Ụzọemezie kelee ndị be ha maka ụdịrị nkwado ha nyere ya n'okwu ahụ dapụtara. O mechaa were gwa ha ka ha lawa na a ga-eme ka ha mara otu Nzeka ha siri jee mgbe ọbụla ha lọtara. Ha niile gbasaa lawa n'ezinaụlọ ha n'otu n'otu were na-eche mgbe egbe gara mba ga-alọta.

Akụkọ gakwara n'ihu na-arị ibe ya elu n'ime obodo na a kpụrụla Nwọhịa na Ọnwụha ga gbuo n'ime ọhịa dịgasị iche iche dị n'ịkpa Alaukwu, mana ụfọdụ nwere ndị ga-akọrọ ha nke ọma ka o si aga n'Alaukwu nụrụ na ọ bụ ndị Ụmụnka ka a kpụnyere Nwọhịa na Okechi. Na a kpụụrụ Ọnwụha gawa n'agbara Dagburu ka a mara ma aka ya ọ dị n'ọnwụ Ọhahụrụ n'eziokwu dị ka Nwọhịa siri kpọọ ya aha na o so ha kpaa ya bụ arụ.

Tupu o ruo mgbede abalị ụbọchị ahụ, Udenkwọ na ndị otu ya kpụrụ Nwọhịa na

Okechi bata Ụmụnka. Ndị be ha jupụtara na mbaraezi Nze Iyiegbu, na-eche ha ka ha lọta. Mkpu dara ebe niile oge ndị a jeere obodo ozi batara, mana Ọhahụrụ bụ isi a hụrụ kwaba okpu esoghị ha. A sị onye a tụọrọ ilu were kọwaara ya mara na ego e jiri lụta nne ya lara n'iyi. O doola ewu na ọkụkọ anya ugbua na Ọhahụrụ alaala mmụọ. Akwa nwunye Ọhahụrụ bụ Ugodiya bere ụbọchị ahụ ka mma mmadụ ịnọ ebe ahụ were ntị ya nụrụ ihe si nwaanyị ahụ n'ọnụ were na-apụta karịa ịkọwa ya akọwa. N'ezie a hụla ndị dike gara ọgụ, ihe ọzọ bụ ịjụ ha ihe ha jiri lọta. Udenkwọ na ndị otu ya kpụụrụ Nwọhịa na Okechi kpụnye Nze Iyiegbu dị ka ihe ha jiri si Alaukwu lọta.

Ha kọọrọ Nze Iyiegbu ihe Eze Ụzọemezie gwara ha, na Ọhahụrụ abụrụla onye nwụrụ anwụ, na ọ bụ mmadụ abụọ ahụ sooro ha lọta bụ ndị ya na ndị Alaukwu chọpụtara na ọ bụ ha gburu Ọhahụrụ. Ọ bụ ya kpatara ya na ndị be ha jiri kpụrụ ha kpụnye ha, sị ha kpụrụ ha

lawa, ihe masịrị ha ka ha were ha mee, na ọ dịghị ihe jikọrọ ha na ndị ọjọọ.

Ha kọwakwaara Nze Iyiegbu otu ogbugbu e gburu Ọhahụrụ siri wute Eze Ụzọemezie na ndị be ha bụ Alaukwu nke mere na ha dupụtara ha n'ụzọ mgbe ha na-alọta. Mgbe a na-akọrọ Nze Iyiegbu ihe a niile, Nwọhịa na Okechi kwụ n'ihu ya ebe a kwụsara ha, kpọdochaa ihu n'ala were na-eche ahụhụ ọzọ a ga-ata ha na ụdịrị ọnwụ ha ga-anwụ n'ala Ụmụnka, maka na ha ghọtara nke ọma na ọ sọgodu eluigwe na ala mekọta ọnụ, ọ dịghị ihe ga-eme ka ndị Ụmụnka ghara ime ha ihe ka ihe ahụ ha mere Ọhahụrụ n'ihi na ụgwọ ọchụ bụ ọnwụ. Oge e gosichara Nze Iyiegbu Nwọhịa na Okechi, o lere ha anya, hihie n'isi duo n'ubu wee gbapụrụ ihe ọjọọ ngịrị. Nze Iyiegbu kelere Udenkwọ na dimkpa itoolu ndị ọzọ otu ha siri gaa ije ka dike were sị ha na ntụpọ adịghị n'ije ha gara ma ọlị, na otu ha siri gaa ya gosiri na ha bụ dike n'ezie. Ọ gwara ha ka ha kpụpụ Nwọhịa na Okechi na mbaraezi na ọ na-apụta ka ọ gwa ọha na eze

ndị Ụmụnka okwu. Mgbe a na-akpụpụta ha n'ezi, ọgbọ ejula. Ha kpụrụ ha ga dowe ha n'etiti ọgbọ, ndị Ụmụnka gbaa ha okirikiri wee chịrị anya wụkwasa ha. Tupu Nze Iyiegbu apụta ka ọ gwa ha okwu, o wusaala ebe niile na ọ bụ ha gburu Ọhahụrụ. Ụfọdụ na-abụ ha asọ. Ụfọdụ na-atụ ha okwute mana o nwere ụmụnwoke ndị nke ọ dị ha ka ha were mmaoge bepụ ha isi ka ogologo okwu niile ahụ bee nkenke. Mana Udenkwọ gwara ha ka onye ọbụla nweta ndidi ka Nze Iyiegbu gwa ha okwu.

Ozigbo Nze Iyiegbu pụtara, ihe izizi o mere bụ na ọ gụpụtara ụmụokorobịa iri, kpọrọ ha gaa n'obi ya were sị ha chịrị ọgụ ise ụmụodibo ya chịpụtara n'obi ya gaa n'ajọ ọhịa ndị Ụmụnka je gwuo ili ebe a ga-eli mmadụ abụọ ahụ bụ Nwọhịa na Okechi.

Ha chịrị ọgụ gawa ka ha ga mee ihe onye na-achị obodo ha gwara ha mee n'etufughị oge ọbụla. Ka Nze Iyiegbu pụtara ọzọ na mbaraezi ya ebe ndị ọ na-achị na-eche ka ha

nụ ọnụmmiri okwu ya wee mara otu ha na ndị naara ha ụra rahụ ga-esi jee, ọ sị ha,

“Ụmụnka kwenụ o”
“Ya a a!”
“Mụọnụ o o”
“Ya a a!!
“Zụọnụ o o”
“Ya a a!!!
“Ụmụnka kwezuonụ o o”
“Ya a a a!!!!

“Eee m, unu lee anya unu ga-ahụ na ndị gaara anyị ozi alọtala. Ọkọ atụghị ha, mmiri abaghịkwa ha ntị, kama onye ha chọọrọ ga Alaukwu esoghị ha lọta. Bido taa gawa, onye ọbụla n’ime anyị were obi ndidi chezọwa ihe ọbụla gbasara Ọhahụrụ n’ihi na ebe ọ nọ ugbua agaghịkwa eru anyị aka ọzọ. Ọ bụrụ na a sị na ọ bụ n’aka ike ka a ga-eji kpọlata Ọhahụrụ, anyị nwere ndị ike na-arụ afọ ga-akpọlata ya n’otu ntabianya. A sịkwanụ na ọ bụ ọgụ ka a ga-alu iji were kpọlata ya, anyị nwere ndị dike ga-asị kama ha agaghị

akpọlata ya, kama agha rie isi ha. Mana ugbua, ọ dịghị ihe anyị ga-emenwu n'ihi na Ọhahurụ unu na-atụ anya ya anwụọla! Ọ nwụrụ ọnwụ arịrị, n'ihi na ọ rịaghị ọrịa ọbụla were nwụọ. Ọ bụ mmadụ ibe ya ji aka were gbuo ya, anyị ahụghị ozu dike ahụ anya. Ha tufuru ya etufu, ha riri ya eri, ha liri ya eli, anyị amaghị. Naanị ihe anyị maara bụ na ya bụ dike alaala mmụọ."

"Ọ bụ mmadụ abụọ kwụ ebe a ugbua ka ndị be ha bụ ndịAlaukwu kwuru na ọ bụ ha gburu Ọhahụrụ ka o si ahịa alọta. Eze Ụzọemezie bụ onye na-achị ndị Alaukwu kọwara na ọ bụ n'ime ụzọ ịkpa jikọtara anyị na ha ka ya na ndị be ha chọpụtara na ọ bụ ebe ha nọrọ were mma dulaa Ọhahụrụ mmụọ. Ọ bụ ya kpatara ha jiri kpụnye anyị ha maka ha maara nke ọma na onye ọbụla riri amụ ebulu ji ibi ụgwọ. Agwa a ha kpara gosiri anyị na ogbugbu ndị obi ọjọọ nọ na be ha gburu Ọhahụrụ adịghị ha mma n'obi. Unu maara nke ọma na o nweghị obodo ọbụla e nweghị ndị ajọ mmadụ, ma na be anyị a bụ

Ụmụnka, ndị arụrụala na-eto afọ nọ ya. N’ihi nke a, ọ dịghị ọkpụrụkpụ ụta ọbụla anyị ga-atawa Eze Ụzọemezie na ndị Alaukwu, maka ha bụ enwe amaghị mgbe nwa ha kwọ n’azụ ji ghọrọ ụtụ rachaa. A gara sị na ya na ndị be ha kpara agwa gosiri na ihe mere Ọhahụrụ agbasaghị ha, anyị egosi ha na a naghị eri ji anyị n’ike maka na ọ chara mmanụ. Anyị ga-akpụrụ mmadụ abụọ a gawa ozigbo n’ajọ ọhịa anyị, ga mee ha ihe anyị na-eme ndị mere arụ na be anyị. Maka na ọ bụrụ na anyị nọrọ na-ele ha n’anya, obi ga na-agbọwa anyị.”

Oge Nze Iyiegbu kwuchara okwu, anyammiri juru ọtụtụ mmadụ nọ ebe ahụ anya mgbe ha nụrụ hoo haa na Ọhahụrụ anwụọla. Onye gwara ndị Ụmụnka okwu mgbe Nze Iyiegbu kwuchara okwu bụ Udenkwọ. Ọ sịrị ndị be ha, “Ndị be anyị, ekelee m unu. Enweghị m ọtụtụ okwu mụ ga-ekwu. Alaukwu ga-ama na ọ bụ nwa dike ka ha gburu maka otu mkpụrụ aka rụta mmanụ o zuo ọha niile ọnụ. Kama mụ agaghị ebo ha apa ala ala, kama ọnwụ

gburu Ọhahụrụ nwanne m nwoke bịa kpụrụkwuo m na ezinaụlọ m na ndụ. Unu anwụchula.” Okwu ahụ Udenkwọ kwuru mere ka ọtụtụ ndị mmadụ nọ ebe ahụ bepụta anyammiri ọ kachasị ụmụnwaanyị na ụmụaka no ebe ahụ ndị nke bịara ka ha were anya ha hụrụ ndị ahụ a siri na ọ bụ ha gburu Ọhahụrụ.

Nze Iyiegbu nyere ụmụnwoke iwu ozigbo ka ha chụlachaa ụmụnwaanyị na ụmụaka nọ n’ọgbọ ebe ahụ tupu ha kpurụ Nwọhịa na Okechi gawa n’ajọ ọhịa.

Ha kpụụrụ ha gawa ebe a kwadowere ha ga-anọ were hụ chi ha n’anya. Ha kpụụrụ ha na-aga n’ihu, Nze Iyiegbu na-eso ha n’azụ, ụmụodibo ya buru oche ya na-eso ya n’azụ. Nze Iyiegbu nyere ha iwu ka ha ghara imetụ ha aka tutu ha eruo n’ajọ ọhịa ebe ha na-aga. Ka ha ruru ebe ahụ, ndị na-egwu ili ha egwuchabeghị ya. Nze Iyiegbu gaa n’otu akụkụ ga nọdụ ala n’oche e doweere ya, ụmụokorobịa kpụrụ Nwọhịa na Okechi ga

gosi ha ili ha ebe a na-egwu ya. O nwere ka a ga-emeru mmadụ ihe, e mesie ya obi. Obi Nwọhịa na Okechi bụzi gem ugbua. Obi ha esila n'ụwa a pụọ. Naanị ihe ha na-echezi bụ otu ụwa ọzọ ha ga-abanye na ya ga-adị ma ha nwụọ, maka ha maara nke ọma na ọ sọgodu Chukwu Nna kere ụwa si n'elu gbadata n'ala, ọ gaghị egbochi ndị Ụmụnka ime ha ihe ha mere nwanne ha nwoke bụ ohahụrụ. Otu nwoke onye Ogbunka sị na ọ bụghị ọnwụ ya ga-anwụ na-ewute ya kama ọ bụ ihe ya ga-arịa were nwụo na-ewute ya n'ihi na onye dị ndụ ga-anwụrịrị anwụ.

Ụmụokorobịa ndị Ụmụnka imere mmadụ ebere lara n'obi ka tọrọ, gbajitechara ụtarị n'ime ọhịa ebe ahụ were bido kụwa Nwọhịa na Okechi ihe ụzụ na-akụ igwe. Nwọhịa na Okechi kwekatara ude, bido tiwe mkpu akwa na-akpọku ndị Alaukwu nwe ha, mana oku ahụ ha ji obi mwute akpọ ndị be ha bụ ihe lara n'iyi n'ihi na ndị be ha bụ Alaukwu ajụla ha otu nkịta siri jụ nsị ehi, were chefuo ha otu e siri chefuo afụ na anịnịị.

Mgbe ha kụkatara Nwọhịa na Okechi ụtarị dị n'ọhịa, otu nwokorobịa obi fere azụ a na-akpọ Anyaegbu gbara ọsọ gaa n'otu ukwu nkwụ dị n'ọhịa ebe ahụ, gbujipụta igbegiri tọgbọ n'ala ya, buru ya gbara ọsọ ga tie ya Nwọhịa n'azụ. Ogwu niile dị n'igbegiri ahụ kpọkenyechaa ya n'azụ, Nwọhịa daa n'ala tie na chi ya egbuola ya. Ọ tọgbọrọ n'ala ebe ahụ, ike adịghịzi ya. Ha ga toghepụchaa ya na Okechi agbụ ahụ e kere ha n'aka abụọ n'otu n'otu. Ha kwụsị iti Nwọhịa ihe, na-eche ya ka o kulie tupu ha ebido rụwakwa ya ọrụ n'ahụ. Anyaegbu tipụkwa ọsọ ọzọ gawakwa n'ukwu nkwụ ahụ ọ gara na mbụ n'ihi na ọ sị na ọ gaghị anọ naanị n'ịta ọkpa ọkụkọ ka ose gwụ n'ọkwa. O bute igbegiri ọzọ gbara ọsọ ga titikwuo Okechi n'ala.Okechi soro Nwọhịa tọgbọrọ n'ala ebe ahụ na-akpọku chi ya na arụ emeela ya.

Oge ndị na-egwu ili gwuchara ili ha, ụmudimkpa ndị ahụ na-enye Nwọhịa na Okechi anụ onwe ha n'ọnụ gaa n'ala ebe ahụ ha tọgbọ na-eche ọnwụ ha ga kpụlitekwa ha,

kwụba ha ọtọ. Ha kwụrụ ọtọ, anyammiri na mmee sị ha n'anya na ahụ niile na-ehudata. N'eziokwu, Nwọhia na Okechi egosila na dimkpa bụ mmụọ maka na ha akọwaala na tupu e were aka tigbuo dimkpa ahụ zuru oke, ọ na-adị ka e siri n'ọkụ. Ka ndị gwuru ili gwachara Nze Iyiegbu na ha emechaala ihe o ziri ha, o nyere iwu ka a kwụsị iti Nwọhịa na Okechi ihe, ka a kpụrụ ha gawa ebe ahụ ili ha dị. Ka ha kpụruru ha ebe ahụ, Nze Iyiegbu nyere iwu ka e nyekwuo ha ahụhụ ikpeazụ. Oge ụmụokorobịa ji ahụ ha amụ ka e si akụ ụtarị, ka Udenkwọ mịịrị obejiri ya baa n'ime ọhịa pịchata osisi, gbara ọsọ ruo ebe Nwọhịa nọ, were ya sụkpulaa ya na ntị, woghariạ ya, Nwọhia tie mkpu akwa ala ji ama jijiji, Udenkwọ mịpụta ya, osisi ahụ bụrụ ọbara ọbara. O sị Nwọhia na ọ bụ ntị ka ọ gbaghere ya, ebe ọbụla ọ ga-anọ ka o were ya na-anụ ihe. Mgbe Okechi nụrụ mkpu akwa Nwọhịa, o bidokwara tiwe mkpu akwa nke ya maka ọ maara na ihe ọbụla e mere ebu na a ga-emerịrị ya aṅụ. Ozigbo Udenkwọ si na ntị Nwọhịa mịpụta osis ahụ, o were ya mekwuo

Okechi ihe o mere enyi ya nwoke. Udenkwọ were osisi ahụ o jiri gbaghee ha ntị tụnye n'ili ahụ. Ọ mịrị obejiri ya ozigbo bere Nwọhịa na Okechi otu aka na otu ntị n'otu n'otu tụpụ n'ala. Ọ chịrị aka ha chịkpuo n'ili ha, were ntị ha kpụnyechaa ha n'ọnụ n'otu n'otu sị ha tawa. Mgbe ihe Nze Iyiegbu na-ahu karịrị anya ya, o nyere iwu ka ha kwakpuo ha n'ili ha ma lie ha na ndụ. Ụmụokorobịa kwara ha ozigbo kwanye n'ime otu ili ahụ ha gwuru, kpochie ha aja na ndụ. Udenkwọ hichaa obejiri ya n'aja, were mma ya mịnyekwa n'ọbọ ya. Ka ha lichara Nwọhịa na Okechi na ndụ, Nze Iyiegbu kelee onye ọbụla biara ebe ahụ maka ọrụ ha rụrụ, ya na ndị obodo ya yịrị lawa, ndị ọzọ ga na mmiri dị n'ịkpa ebe ahụ gaa ghụpụchaa ahụ ọrụ ha rụrụ. Ha mechaa yịrị n'igwe kọrọ akụkọ lawa. Ha na-ekwukọrịtakwa n'etiti onwe ha na ebe ọbụla mmụọ Ọhahụrụ nọ ugbua, na ọ ga-enwe obi ọcha n'ihi na agụ atagbuola ndị rụnyere ya aka n'ọnụ.

## Isi Nke Ise
## OGBU MMA NA-ALA NA MMA

Mbata Nzeka na dimkpa anọ ndị ọzọ so ya, na Ọnwụha Ọgụdiru, na chi ojiji na Dagburu, bụ pem na Dagburu. Ije ha gara werewere. O nweghị nsogbu ọbụla Ọnwụha nyere ha n'ụzọ ka ha na-aga aga njem ahụ. Ha niile ji otu obi were garuo obodo ahụ bụ Dagburu. Ị hụ ha n'ụzọ o nweghị otu i ga-esi mara ihe dị iche n'akịdị na àgwà ma ọ burụ na a kọwaghịrị gị. Ha niile kpaara nkata, were ọchị na amụ ruo Dagburu. Ọ dịghị onye a maara dị ka onye a kpụ akpụ maọbụ na ọ bụ ndị a kpụ onye dị otu ahụ, naanị ma a tọgheere gị ngwugwu bụ na ị mata ihe e kechiri n'ime ya.

Ihe kacha tọọ ha ọchị bụ na a pụtara n'ụzọ Ọnwụajụase kpọọ Nzeka sị ya na ebe ahụ ha na-aga tere aka nnukwu, na ike agwụla mmọnwụ n'ije. Maazị Nzeka sị ya, "Nwanne m nwoke, jisie ike na anyị eruwela ebe anyị na-aga, ọ bụ Ọnwụha Ọgụdiru na-enye anyị

ahụhụ a anyị na-ata." Ọnwụha wee sị Nzeka na ọ dịghị ahụhụ ọbụla ọ na-enye ha, na ọ bụ ha kenyere onwe ha ahụhụ ahụ ha na-ata n'ihi na ọ bụ ka a hụtachaa ka mgbọ ji atụ enwe n'isi. Ha niile dapụ n'ọchị. Onye chịa, o lee ibe ya anya ka ọ mara ma ọ na-achịkwa. E mechaa Ọnwụajụase jụo Ọnwụha ihe kpatara o jighị chọọ ikweta na o so Nwọhịa na Okechi ha were meminaa Ọhahụrụ ka okwu bee nkenke karịa ịtara ha ahụhụ a gawa Dagburu. Ka Ọnwụajụase jụchara Ọnwụha ihe a, ndị ọzọ na-ege ntị ka ha mara ihe Ọnwụha ga-asa ya. Ọnwụha lee ya anya chịa obere ọchị wee were nwayọọ sị Ọnwụajụase, "Ewo! Nwanne m nwoke, ụta ọbụla adịghịrị gị. Ọ dịghị ụta ọbụla mụ ga-ata gị n'ihi na ọnwụ ọkụkọ na-atọ ọgazị ọchị. Amaara m na ọ dị ụfọdụ n'ime unu ka mụ kweta n'ihe ahịa kwuru. Mana ọ dịghị onye ọbụla ga-ata unu ụta maka na ọ bụ e buru ozu onye ọzọ ọ dị ka e bu ukwu nkụ. Ọ bụ eziokwu na agwa na-akacha mma ma eke tụọ ya, mana ọ bụghịkwa arụ ma anụ ọzọ tụọ ya. Ọ ga-amagbu onwe ya ma anyị laghachikwa azụ

n'Alaukwu ka a kpọkọọ ndị be anyị ka Ọnwụajụase pụta n'ọgbọ sị ha na ihe ahụ ha na-achọ n'uko elu na ha ahụla ya n'uko ala. Na ọ bụ ya bụ Ọnwụajụase bụ onye a na-achọ achọ so Nwọhịa na Okechi were gbuo Ọhahụrụ. Na ọ dịghị ihe ọbụla mụ onwe m bụ Ọnwụha nwa Ọgụdiru mere. Ọ bụrụ na o mee otu ahụ, ndị obodo anyị ga-anabata ya nke ọma, kelee ya dị ka nwaamala na-ekwu eziokwu." Nzeka na ndị ọzọ ekweghị ka Ọnwụha kwuchaa ihe ọ kpụ n'ọnụ tupu ha bido nwụwa n'ọchị. Ha chikatara ọchị, ngụgụ abụọ fụwa ha ụfụ.

Mgbe Ọnwụha hụrụ na ike ọchị agwụla ha, ọ sị ha achịzila ọchị n'ihi na ọ bụ onye ọrịa na-ekwu ka ọ dị ya, onye agbataobi asị na a na-ekwuchi ya ntị. Kama ọ dịghị nsogbu ọbụla dị na ya n'ihi na ọkụkọ sị na ihe o jiri mara na ụwa kpọrọ ya asị bụ na ha hapụrụ akpala ya were ego gawa ịzụta ogiri n'ahịa. Na ya bụ Ọnwụha agwachaala ndị Alaukwu eziokwu niile dị ya n'olu na aka ya adịghị n'ọnwụ Ọhahụrụ mana ha ekweghị, were sị

ka a kpụrụ ya gawa n'agbara Dagburu ka e jee mata nke bụ eziokwu. Ọ sịrị ha na ebe ọbụla ha chọrọ ka ya soro ha gaa, na ya gaeso ha n'ihi na onye ọ dịghị ihe o bu, o nweghị ihe ọbụla ga-anyị ya arọ. Ọ bụ ụdịrị nkata ọchị dị otu a dịgasị iche iche ka ha na Ọnwụha jiri zọbata ọkpa na Dagburu.

Ozigbo ha gbara ọkpa na Dagburu, ha doro ihu n'obi Ọzọ Uruagwụ. Ka Nzeka na ndị otu ya batara na be eze ndị Dagburu, ha kwudoro Ọzọ Uruagwu ebe ya na ụmụnwoke naabọ ndị Dagburu na-akparịta nkata mgbede anyasị n'obi ya.

Mana ozigbo ọ hụrụ Maazị Nzeka na ndị so ya n'azụ n'obi ya, ọ hapụrụ mmadụ abụọ ahụ ya na ha nọ, wee kelewe Maazị Nzeka ha n'ihi na ọ bụ a hụ ihe ka ubi e ree ọba. Oge o kelechara ha, ihe izizi ọ jụrụ ha bụ ma udo ọ dịkwa nke a ha jicha egbe na mma, were anyasị na-abịakwute ya na be ya; ma Eze Ụzọemezie

o ziri ha ozi ka ha bịa kpụta ya, ka o were ugbua tiere ndị ala ya mkpu, kọọrọ ha na aka akparala ya, n'ihi na ihe na-egbu okenye bụ a hụ e kwughị. Ha niile chịwa ọchị, ma ndị bịara abịa, ma ndị nọ anọ na be ya, n'ihi na ha maara na oti ọkpọ anaghị eti isi akwụ. Maazị Nzeka mechaa sị ya atụla ụjọ n'ihi na nsogbu ọbụla adịghị. Maka na onye tinye isi ka o buru ala, ala anyịgunyụọ onye ahụ anya. Ọzọ Uruagwụ na Eze Ụzọemezie bụ ezigbo enyi. Ọ bụ site n'aka Eze Ụzọemezie ka Ọzọ Uruagwụ siri mara onye Maazị Nzeka bụ. Ọ hụla Maazị Nzeka ọtụtụ ugboro ọ bịarala na nke Eze Ụzọemezie. Ha na-anọkọkwa nke ọma mgbe ọbụla Ọzọ Uruagwụ bịakwutere ha.

Ọzọ Uruagwụ kpọrọ otu onye na ndị odibo ya sị ya wetara ndị bịara na be ya ọjị. Odibo ya gbaba n'ụlọ ozigbo wepụtara ha ọjị. Ọ bụ eziokwu na Igbo na-ekwu okwu mgbe ụfọdụ na abalị eburula ọjị, kama ọ dịghị ka abalị ọ na-eburu ọjị na be Eze. Maka ihe niile kọchaa Eze, ọjị na mmanya anaghị akọ ya

n’ihi na ọ bụ isi zuru okpiri na-ebu okpiri. Maka na onye ụbịam anaghị aza Omeọkachie. Ọzọ Uruagwụ buru ọkwa ọjị bunye Nzeka sị ha na ya emee ọjị. Nzeka nata ya ọkwa ọjị ahụ, kelee ya, buru ya gosichaa ndị ya na ha so were bịa na mmadụ abụo ahụ ha kwudoro ebe ahụ ọjị Ọzọ Uruagwụ wetara. Ka ha kelechara Ọzọ Uruagwụ maka ọjị o wetara, Maazị Nzeka burukwa ọjị ahụ bunye ya were sị ya mezie ya ka ha taa n’ihi na ọjị Eze dị Eze n’aka.

Ọzọ Uruagwụ nara ya ọjị, kpara ọfọ ya n’aka, bido goziwe ọjị ahụ. Ọfọ ọbụla ọ gọrọ mgbe ọ na-agọzi ọjị ahụ, o tie ọfọ ya n’ala.

“Ndị be anyị, anyị ga-adịnụ o o!
“Onye sị na anyị agaghị adị, ya adịkwala”
“Ise!”
“Onye chọrọ ihe ọma, ihe ọma zowere ya ka mmiri. Onye chọkwaranụ ihe ọjọọ, ihe ọjọọ bụrụ atụrụ tawa na nke ya.”
“Ise!”
“Chukwu Nna bi n’eluigwe. Chi Okike,

Olisabụrụwa, Chi Ukwu anyị na-ekpere, na-asọpụrụ, Ọbasị bi n'eluigwe ọgọdọ Ya na-akpụ n'ala, biko gbakwute ụmụ ohu gị, nụrụ ekpere anyị na arịrịọ anyị. Biko buoro anyị ụzọ kpeere anyị azụ n'ihi na ọ dịghị nke anyị ma. Mee ka ihe ọbụla onye ọbụla n'ime anyị na-achọ bụ ihe ọma ruo onye ahụ aka, ka ihe ọbụla bụ ihe ọọọ onye ahụ chọrọ kpuo onye dị otu ahụ ihu n'ala!"

"Ise!"

"Chineke, Nna anyị na-arịọkwuazị Gị ka I mee ka ụmụnne anyị si Alaukwu were bịa chọpụta ihe ha chọọrọ wee bịa. Mgbe ọbụla ha lawara, ka ụkwụ ghara ịkpọ ha n'ụzọ."

"Ise!"

"Nna nna anyị ha, biko soronụ anyị taa ọjị n'ihi na a naghị echefu isi aka ma a gbawa ụrịọm. Dubenụ anyị n'ihe ọbụla anyị na-eme ka ụkwụ hapụ ịkpọ anyị."

"Ise e e e o o!!!"

Ka Ọzọ Uruagwụ gọchara ọjị ahụ, ọ warichaa ya, were mpempe ọjị ole na ole chịpụrụ ndịmmụọ n'ezi, were aka ọjị ya suru

n’ose dị n’ọkwa ọjị ahụ, taa. Ọ kpọọ odibo ya, o buru ọjị ahụ kee mmadụ niile nọ n’obi ya ahụ. Ka ha tachara ọjị, ụmụnwoke abụọ ndị Dagburu ahụ nọ na nke Ọzọ Uruagwụ kelere Ọzọ Uruagwụ, kelekwuo ndị Alaukwu chọtara ha, were lawa iji nye ya ohere ka ya na ndị chọtara ya were kpaa nkata nke ọma maka ihe ha jiri maka ya were bịa.

Maazị Nzeka kọwaara Ọzọ Uruagwụ ihe kpatara ha jiri bịawa Dagburu n’ihi na awọ anaghị agba ọsọ ehihie na nkịtị. Ọ gwara ya “Ọ bụ Eze Ụzọemezie na ndị Alaukwu zitere anyị ka anyị bịa jụta agbara Dagburu otu ihe na-ata anyị mmiri n’ahụ. O nwere otu nwoke anyị na ya so ugbua a anyị jiri maka ya were bịawa. “Nzeka rụọrọ Ọzọ Uruagwụ Ọnwụha Ọgụdiru aka ebe o tukwu i jiri mee ka onye bịara na be ya ghọta onye ọ na-ekwu; o kwuru ihe ọ na-ekwu gawa n’ihu, “O nwere ndị dimkpa abụọ ndị be anyị e jidere gburu otu nwokorobịa ọma onye Ụmụnka bịara ahịa na be anyị, ha kpọrọ nwoke a nọ ebe a aha na o so ha rụọ ala ahụ mgbe a na-ajụ ha

ajụjụ ka a jụpụta ha eziokwu n'ọnụ. Mana e mere elu, mee ala, nwoke a anyị na ya so ha kpọrọ aha na o so ha, ekwetaghị chaachaa na ọ maara maka ihe ahụ mmadụ abụọ ahụ mere. Ọ kọwara na ọ bụ chi ọjọọ ya kpatara ha jiri kpọọ ya aha. Na ọ dịghị ihe ọbụla ọ maara banyere ọnwụ nwoke ahụ. Igbo kwuru okwu sị na a naghị eri ji nwata n'ike maka na ọ chara mmanụ, ọ bụ ya kpatara e jiri zipụ anyị ka anyị je jụta agbara ma ihe ahụ ọ na-ekwu ọ bụ eziokwu ka ọ bụ asị. Anyị chere na ọ bụ ihe anyị ga-emecha taa, lakwurukwa ezinaụlọ anyị n'Alaukwu, mana chi jibidoro anyị n'ụzọ."

Ka Maazị Nzeka kọchaara Ọzọ Uruagwụ ihe ha jiri bịa, o kelere ya na ndị so ya, were sị ha enyela onwe ha nsogbu n'ihi na ije ha bịara agaghị aghọ ha ahịa. Ọ gwara ha na onye ọbụla bịara n'agbara Dagburu na-aachọta ihe o jiri maka ya were bịa n'ihi na agbara ga-emerịrị ihe ahụ o jiri bụrụ agbara ma gosikwa ihe ahụ e ji anụ aha ya anụ n'ọtụtụ mba dị iche iche. N'ihi na onye a na-

achụ ehi akpọku, ọ bụrụ na o jighị ọgbịrị ehi, o jide ọgwụ ya. Kama ọ sị ha na ihe merenụ bụ na ha ga-enweta ndidi rahụ na nke ya, chi ụtụtụ foo, ọ kpọnye ha onye ga-eduje ha n'agbara ka ha ga jụta ya mkpa ha n'ihi na ọ bụ ụtụtụ ka e ji eje na ya. E jighị ehihie maọbụ abalị aga n'agbara Dagburu. Oge Ọzọ Uruagwụ gwachara ha ihe a, ha kwetara n'ihe o kwuru were kelee ya otu o siri nabata ha na-emeghị obi abụọ ọbụla. Ha sị ya na ọ baghị uru ha onwe ha ịkụwa mgbanụ ebe ha maara nke ọma na chi jiri eji ga-efo efo.

Oge ha na-akapịa okwu a niile ọnụ, Ọnwụha gbachiri ha nkịtị were obi ya na-apị mbazụ ihe ya na ha ga-eje maka na ọ maara nke ọma na chi foo, ọ nwaa anwa soro ha ruo n'agbara, kpọrọkpọtọ agbaa n'ihu ehi.

Ọzọ Uruagwụ kpọọ odibo ya, were gwa ya ka a butere Nzeka na ndị otu ya mmanya ka ha na-emetụ ọnụ. Ọ pụọ were aka ya ga gwa ụmụnwaanyị atọ ọ na-alụ ka ha sie nri butere ndị ọbịa o nwere. Oge ọ na-alaghachitekwa

n’obi ya, Nzeka na ndị so ya bịa ije ebidolarị ṅụwa mmanya e bupụtaara ha. Ka ọ nọdụkwara ala n’oche eze ya, ya na ha na-aṅụkọrịta mmanya, na-akpakọrịta nkata. Ọ jụrụ Maazị Nzeka ase maka ezigbo enyi ya nwoke bụ Eze Ụzọemezie. Maazị Nzeka gwara ya na ahụ siri ya ike, na ọ kwụ chịm ma gbasie ike n’ihi na ọ dịghị ihe na-eme mmọnwụ.

Aha echichi onye ọbụla maara Ọzọ Uruagwụ jiri, mara ya bụ ***‘Akajiọfọ nke mbụ’*** ndị Dagburu. Mgbe ọbụla ị hụrụ ya, ọ ga-ejirịrị ọfọ ya n’aka. Ebe ọbụla ọ nọ, ọ bụrụ na o jideghị ọfọ ya n’aka, ọ ga-adịrịrị ya n’akụkụ. Ọ chọwakwanụ ịga mba, o nwere obere akpa ọ na-eko ọ na-etinye ọfọ ya n’ime ya, n’ihi na ọ bụ ndị nwere ọfọ na-eko akpa ọfọ. Ọ chọwakwanụ ikwu okwu, ọ bụrụ na ọfọ ya adịghị ya n’aka, o nweghị ihe ọbụla ọ ga-ekwu. Ọ bụrụgodu ụra ka ọ na-arahụ, ọfọ ya ga-adịrịrị ya n’akụkụ n’ihi na agadi nwaanyị hapụ ihe o ji ama mma, ugwu ya akpụọ n’ala.

Ndị maara Ọzọ Uruagwụ maara ya dị ka eze zuru onwe ya. Ọ dịghị ihe ọbụla a na-achọ ya achọ na ya maka a gụwa eze ndị katara ahụ n'ọgwụ, ọ ga-eso na ndị izizi a ga-akpọ aha. Ha na-ekwukwa na ọfọ ahụ ọ na-eji n'aka mgbe ọbụla sokwa n'ike o nwere maka ọ dịghị ihe ọbụla o ji ọfọ ahụ n'aka kwuo anaghị eme. Kama ihe ahụ agaghị eme, o mee mmaji. Ọ bụrụgodu ọnụ ka o ji ọfọ ahụ n'aka were bụọ mmadụ, kama ọnụ ahụ agaghị ere, o ree mmaji. Ihe onye na-eme ka e ji ama ya. Ọzọ Uruagwụ bụkwuazị eze kwetara n'egbe bere, ugo bere, nke sị ibe ya ebela, nku kwaa ya n'ike. Ọ naghị etigbu mmadụ maka na ọ karịrị onye ahụ. Tupu o mee mmadụ ihe, ọ ga-ejidere onye ahụ ọfọ na ogu.

Oge ha na-aṅụ mmanya, na-akparịta nkata, na-achị ka ndị ọ dịghị ihe ha chefuru n'ụwa, ka ndị nwunye atọ Ọzọ Uruagwụ, buteere Nzeka na ndị otu ya ụtara na ofe onugbo e siri nke ọma n'otu n'otu. Nzeka ha hapụrụ mmanya ha na-aṅụ, were iwe ihe agụụ mere

ha n'ụzọ na ike ọgwụgwụ ji ha were dakpo nri ahụ, were mee ya ihe ọkụ mere ntị oke. Igbo kwuru okwu na uche naabọ ekweghị onye ọrịa rie ihe o nwere. Ọ bụ eziokwu na Ọnwụha so ibe ya eri ihe e weteere ha, mana obi adịghị ya mma. Ụwa na-agbụ ya ma o cheta na a kpụ ya akpụ were bịa ije ahụ. Mana, ihe kacha ewute ya bụ ihe e nwere ike ime ya ma ọ laruo Alaukwu ma ọ bụrụ na agbara gbaa ama ma kọwapụta n'ezie na o so gbuo Ọhahụrụ. Ọ nọkata o chee n'uche ya na ọ maghịzi ebe Nwọhia na Okechi nọ. Ha nwụo anwụ, ha nọrọ ndụ, a na-ata haahụhụ, ọ maghị. Ọ maara na ọ gaghị adịrị ya mma ma ọ burụ na ha jechaa n'agbara ama akịdị were gbaa na nsị n'ihi na o werela isi ahụrụ were mara ụtọ nsị, maka ihe ha ga-eme ya na nke a, ga-aka nke e mere ya na mbụ. O chechaa ihe a niile, ụwa a na-elu ya naanị ilu n'ihi na onye maara na ọ ga-anwụ ụdịrị ọnwụ ahụ adịghị mma inwe obi ụtọ.

Ka ha richara nri, ha bidoro nụwakwa mmanya, na-amarịtakwa onwe ha njakịrị, na-

achị ọchị ka a ga-asị na ha amaghị ihe ha bịara. Ọnwụha sokwa ha achịkọrịta ọchị, mana ọchị nke ya bụ ọchị eze n'ihi na onye nọ n'ụdịrị ọnọdụ ọ nọ agaghị enwe obi ọcha. Ma Nzeka, ma dimkpa anọ ndị ọzọ so ya chefuru na onye ya na ndịmmụọ na-erikọ nri na-eji ogologo ngajị eso ya. Ha weere Ọnwụha otu ha siri were onwe ha nke mere na ha chefuru na dike na-eke nkwụcha mgbe ọbụla n'ihi na ọ bụ site na mberede ka ihe na-egbu ha si abịa. Ha niile kosacha n'elu oche dịka akpa ajị ihe adịghị n'ime n'ihi ike gwụrụ ha maka ogologo ije ha gara. Ha nọ na-aṅụ mmanya Ọzọ Uruagwụ bunyere ha, were chefuo kpamkpam na ha na onye iro nọ. Na ha kwesịrị iche ndụ ha nche nke ọma ma werekwa anya dinta ji edo anụ na-ele Ọnwụha mgbe ọbụla. O doro ewu na ọkụkọ anya na onye obi adịghị mma nwere ike ime ihe ntị na-asọ ma ọ hụ ohere. Oge ha ṅụkatara mmanya, Maazị Nzeka si n'oche ya kulie, were obejiri ya na egbe o ko dowe n'oche ahụ o siri kulie wee gakwuru Ọzọ Uruagwụ n'oche ebe ọ nọ ka ọ jụta ya usoro

otu e si eje n'agbara n'ihi na arụsị ọbụla nwere ihe ọ na-eri na ihe ọ na-asọ. Ọ chọkwuru ịjụta ya ma ha ga-agba ụzọ were jee ebe ahụ ka ha ga-echere ka chi fo nke ọma tupu ha agawa. Nzeka nọọrọ ala n'oche dị Ọzọ Uruagwụ n'akụkụ nke ọ bụ naanị onye ya na Ọzọ Uruagwụ nwere nkata pụrụ iche na-anọ na ya ma ha na-akpakọrịta nkata ahụ.

Mgbe Nzeka hapụrụ oche ya gakwuru Ọzọ Uruagwụ ebe o tukwu, egwu tụrụ Ọnwụha n'ihi na onye na-egbu mmadụ anaghị achọ ka e were mma gafee ya n'azụ. Ọnwụha lee ha anya ebe ha na-akpa nkata, o wepụkwa ihu ya. Nnukwu ụjọ jidere ya n'ihi na ọ sịrị na ọ maghị maọbụ ya ka ha na-akpara nkata otu ha ga-esi bee ndụ ya nkenke n'abalị ahụ, na Dagburu. Ọ maghị maọbụ ka ha bịa gbuo ya ma ọ bụ resị ya Ọzọ Uruagwụ ka Eze Ụzọemezie gwara ha, wee kpachara anya sị ya na ọ bụ ka ha bịa jụta agbara ma aka ya ọ dị ọcha ka ọ bụ na ọ dịghị. Mgbe ọ na-atụle ihe ndị a n'uche ya, o nweghị onye ọbụla nọ

n’obi Ọzọ Uruagwụ maara ihe bụ uche onye e ji n’ala. Oge Ọzọ Uruagwụ ji nwayọọ na-agwa Nzeka na ha agaghị agba ụzọ, na ọ bụ oge chi foro ka ọ ga-eji gwa ha usoro ha ga-eji jee, ka Ọnwụha Ọgụdiru si n’oche ebe ahụ ọ nọ waliri, si n’ọbọ mịrị obejiri ahụ Maazị Nzeka hapụrụ n’elu oche ya, tụkwasa ya Ọnwụajụase nọ ya n’akụkụ. Ọnwụajụase mapụ, obejiri ahụ gbuwaa oche ahụ ibegiri abụọ. Chi Ọnwụajụase mụ anya ụbọchị ahụ n’ihi na ihe Ọnwụha chọrọ bụ iji obejiri ahụ kewaa ya abụọ, maka na obejiri Nzeka ahụ na-atụ nkọ karịa agụba. Ozigbo Ikebụọnwụ, Ọnwụka na Ọgụagbaka hụrụ ihe Ọnwụha chọrọ ime Ọnwụajụase, ha soro Ọnwụajụase rie mbọmbọ ọsọ n’ihi na mberede nyịrị dike. Onye ọbụla n’ime ha tinye isi ebe masịrị ya maka ha maara na ihe Ọnwụha na-achọ bụ onye ọ ga-egbu tupu isi ya eruo ala.

Ka Nzeka hụrụ na Ọnwụha ewerela mma ọ hapụrụ n’oche ya mesuo ndị ya na ha so, o si ebe ahụ ya na Ọzọ Uruagwụ nọ waliri n’ike ka ọ wara ọsọ, Ọzọ Uruagwụ jide ya sị ya

nọdụ ala, ya agbala ọsọ ọbụla ka o lewegodu nwoke ahụ bụ Ọnwụha anya mara ihe bụ uche ya. Ọzọ Uruagwụ kwuru na ọ gaghị esi be ya tụpụ ọkpa sị na ya na-agba ọsọ. N'ihi na ọsọ anaghị agbara ọsọ, ọsọ. Ọ bụrụgodu na ya gbawa ọsọ, ya agbalaa na be onye. Na Chukwu agaghị ekwe ka ihe ọjọọ mee. Ọzọ Uruagwụ tụtụrụ ọfọ ya jide n'aka ozigbo ọ hụrụ na onwe Ọnwụha na-esizi ya ọnwụ ọnwụ. Mgbe Ọzọ Uruagwụ jiri mara na Ọnwụha nwee imi ọ kpọọ ụtaba bụ oge Ọnwụajụase na ndị otu ya gbafuchara, Ọnwụha kworo ka agụ e merụrụ ahụ sokwute ya na Nzeka ozigbo n'ebe ahụ ha nọ ka o were mma ahụ sụọ ha ata tupu aka akpara ya n'ihi na isi niile bụ otu, ọ dịghị nke ka ibe ya. Ozigbo Ọnwụha welitere obejiri ahụ ka o bere ha isi n'otu n'otu tụpụ, Nzeka si n'oche ebe ahụ ọ nọ tipu ọsọ tibaga n'ime ụlọ Ọzọ Uruagwụ ga zoo. Ọzọ Uruagwụ nọdụ ebe ọ nọ, were ọfọ ya tụdo Ọnwụha n'ihu, gbọọ ya ụja sị ya, "Taa nwa m, egwu ọ na-atụkwa gị? Nwa m, pụọ m n'ihu, sọọ m anya, sọọ ihe so m n'azụ anya. Were mma ahụ laghachi azụ. Ị

makwa ebe ị nọ? Ị makwa onye ị kwụ n'ihu? Taa! Ụjọ ọ na-atụkwa gị? Ị jụkwara ase? Taa nwa m!, laghachi azụ ọsoọsọ!!! Ọ bụ ihe mberede mee a mara dike. Ọnwụha were obejiri ahụ, bere akwa arịrị laghachi azụ. Ozigbo Ọnwụha jiri nwayọọ laghachi azụ ka Ọzọ Uruagwụ si n'oche ya kulie ozigbo makpukwuo n'ime ụlọ be ya kwachie ụzọ. Ozigbo o weere ọfọ ya gbabaga n'ime ụlọ ya, anya doo Ọnwụha. Ihe ji ya hapụkwa ya aka. N'ezie, nwoke karịrị ibe ya. Ihe ọzọ Ọnwụha mere ozigbo anya dokwara ya bụ na ọ fụnyụrụ ọkụ mpanaka ha ji ahụ ụzọ n'obi ahụ wee were obejiri ahụ o ji sochie Maazị Nzeka na Ọzọ Uruagwụ azụ ebe ahụ ha gbabagara.

A sị na ọ bụ ebulu laa azụ, ọ bụrụ ọgụ. Ọnwụajụase na ndị otu ya mechara zụkọta ọnụ were kwado ọgụ ha ga-eji kpara Ọnwụha aka na ndụ maọbụ gbuo ya egbu. Ikebụọnwụ na Ọgụagbaka bucha egbe ha siri mgbọ nke ọma n'aka. Ọnwụajụase na Ọnwụka jidechaa obejiri n'aka, ha goro ngug0 chọrọ Ọnwụha Ọgụdiru gawa. Ha na-aga, ha ana-eze onwe

ha, maka na ọ na-abụ onye na-achụ agwọ na-ezekwuazị onwe ya, agwọ ọ na-achụ a na-eze onwe ya n'ihi na ọ maara nke ọma na ọ bụrụ na agwọ ọ na-achụ nweta ya, ọ tagbuo ya, mana o nwetakwanụ agwọ ahụ ọ na-achụ, o gbuo ya. Ha dooro ya otu ahụ dinta si edo nchi gawa n'obi Ọzọ Uruagwụ. Mana, mgbe ha ruru ebe ahụ nso, ike gwụrụ ha n'ihi na ọchịchịị gbachitere ebe ahụ niile. Ha enweghị ike ịkọwa ebe Ọnwụha zoro were na-achọ onye ọ ga-edula mmụọ. Ha amaghịkwa Nzeka na Ọzọ Uruagwụ gaa n'elu, ha gaa n'ala. Naanị ihe ha kwudoro n'obi ya bụ ọkpụrụkpụ ọchịchịị na ịda owu. Ha niile kechara nkwụcha ka ha na-egogharị achọ Ọnwụha n'ihi na ha ghọtara na onye akpachaghị anya o were isi ya tụọ ụtụ n'aka Ọnwụha Ọgụdiru, n'ije ahụ ha biara na Dagburu.

Mana, ha buuru egbe ha na mma ha tinye isi n'ọhịa, gbafuchaa mgbe ha nụrụ olu mkpu Ọzọ Uruagwụ tiere ndị obodo ya bụ ndị Dagburu ka ha gbapụtachaa bịa nyere ya aka

n’ihi na o nwere ọnwụ bịara ka o gbuo ya na be ya. Ozigbo Ọzọ Uruagwụ tiri mkpu ahụ, Ọnwụajụase, Ọgụagbaka, Ọnwụka na Ikebụọnwụ hapụrụ onye ha na-achọ were rie mbọmbọ ọsọ ụkwụ edetụ aja maka ha maara na ọ bụrụ na ndị ọha obodo Dagburu gbapụta were kwụdo ha ebe ha bucha egbe na mma gbaa obi eze ha okirikiri, na ha ga-anara ha ndụ ha ozigbo na-ajụghị ase ọbụla. Ha gbatee aka, makpuruchaa n’ime ọhịa zochaa were na-aṅa ntị ka ha mara ma ha ga-ama ihe ga-apụta na mkpu ahụ Ọzọ Uruagwụ tiri.

Ihe kpatara Ọzọ Uruagwụ jiri tiere ndị obodo ya mkpu enyemaka bụ maka na ozigbo ọ gbabara na be ya kpọchie ụzọ, Ọnwụha beere akwa obi ụfụ chụrụ ya na Nzeka bịa ebe ahụ ha gbabara. Ka Ọnwụha ruru ebe ahụ, ọ kwaa aka n’ụzọ ahụ ka ọ banye were mma sụọ ha akwụ, o bụrụ na Ọzọ Uruagwụ akpọchiela ụzọ ya. Ọnwụha bee akwa kụọ aka n’isi ya, tie na arụ emee ya. Ọ magoro elu aja ụlọ ahụ ozigbo ka o si ebe ahụ maba ga gbuo Nzeka na Ọzọ Uruagwụ tupu ọnwụ nke ya eruoro

ya. Oge ha hụrụ na Ọnwụha na-achọ isi n'elu aja amabata n'ime ụlọ ahụ, Ọzọ Uruagwụ tinye aka ozigbo sechara mbazụ e ji egwu ji dị n'isi ụlọ ya sụọ ya. Nzeka kpụpụta otu okpiri dị n'okpuru akwa Ọzọ Uruagwụ ọ hụrụ mgbe o piokpuru ebe ahụ buru ya kụọ Ọnwụha. Ọnwụha si n'elu ebe ahụ ọ magooro matuokwa n'ala. Mgbe Ọnwụha na-achọ otu ọ ga-esi rigorokwa elu aja ahụ ọzọ wee wụbaga ebe ahụ ha nọ ka Ọzọ Uruagwụ ji wee tiere ndị Dagburu ọ na-achị mkpu ka ha bịa nyere ya aka gbuo onye bịara igbu ya. Ozigbo ndị nwunye Ọzọ Uruagwụ nurụ mkpu ahụ nna ha ukwu tiri, ha soro ya tiwere ọha obodo mkpu ka ha gbata bịa zọpụta di ha n'aka ndị chọrọ igbu ya. Ha chere na ọ bụ ndị ahụ niile ha bunyere nri si mba ọzọ chọta di ha chọrọ igbu ya. Ụmụ ha nọkwa n'otu akụkụ na-eti mkpu akwa nke ha otu olu ha, ha. Ihe Ọnwụha mere bụ na ọ hapụrụ ndị ọ na-achọ igbu, gbara ọsọ ga kwachie ọnụụzọ mgbo ndị mmadụ ga-esi gbabata na mbaraezi Ọzọ Uruagwụ, n'ihi na e gburu mbaraeze Ọzọ Uruagwụ niile aja okirikiri tinye ya

ọnụụzọ were na-eche onye ga-ebu ụzọ zaa oku ahụ eze ha kpọrọ ha, ka ọ hụ na onye ahụ bu ụzọ zagodu ndịmmụọ tupu ọ zaa nke eze ha.

Otu dimkpa bu ụzọ zaa oku ahụ were mma ya, gbara ọsọ ka onye chefuru ihe bata n'ọnụụzọ mgbo ahụ, kwaghere ya n'ike ka ọ maba na be Ọzọ Uruagwụ ga mara maọbụ mmụọ ka ọ bụ mmadụ bụ onye ahụ chọrọ igbu eze ha. Ozigbo o tinyere isi n'ọnụụzọ ahụ ka ọ banye, Ọnwụha were obejiri ahụ o ji n'aka kpee ya ekwere n'ahụ niile. Nwoke ahụ tiri mkpu akwa laghachi azụ, ọbara na-ezo ka mmiri n'ahụ ya niile. Ama akịdị agbaala na nsị. Ọnwụha werekwa nwayọọ tapọrọkwa n'akụkụ ọnụ ụzọ mgbo ahụ wee chere onye ọzọ ga-etinye isi. Onye Dagburu ọzọ kworokwara ka agụ e merụrụ ahụ kwobaga ka ọ ga mara ihe bụ isiokwu, Ọnwụha werekwa obejiri ya gbaa ya akpụkpọ ozigbo ọ gafetara. Nwoke nke ahụ were ọsọ gbaghachikwa azụ. Ahụ ya niile bụrụ mmee mmee. Akwa ekweghị ya ebe.

Naanị mkpu ka ọ na-etiri ndị be ha na nwoke ahụ Ọzọ Uruagwụ na-ekwu maka ya egbukwaa ya. Mgbe ndị ọzọ na-esota ụmụnwoke abụọ ahụ hụrụ na Ọnwụha Ọgụdiru chọrọ iji mma kpochapụ ha, ha rie mbọmbọ ọsọ. Oge Ọnwụha hụrụ na ndị ahụ bịara ịza Ọzọ Uruagwụ mkpu oku agbaghachichaala azụ, ọ hapụrụ akụkụ ọnụụzọ ebe ahụ o zoro maba n'ọba Ọzọ Uruagwụ, rịa elu nnukwu osisi ọha dị n'ime ọba ahụ n'anyasị ahụ, gaa n'elu ya zoo, n'ihi na ọ maara na ọ kachie ntị nọrọkwa ebe ahụ ọ nọrọ gbuo mmadụ abụọ ahụ mma, na aka ga-akpara ya. Ọzọ Uruagwụ na Nzeka ekweghịkwa esi n'ụlọ ebe ahụ ha nọ apụta n'ihi na ha amaghị ebe agwọ abalị dowere isi ya. Nke kacha ruo ha n'ahụ bụ mgbe ha nọ n'ime ụlọ ahụ were na-anụ olu mkpu akwa ndị Ọnwụha gbuterela mma n'ahụ.

Eze nchi fọgodu otu, ọ ga na-atarịrị nri n'ihi na dimkpa ejighị otito toro ya n'ike eme ngala. Ndị Dagburu ahụ eze ha bụ Ọzọ Uruagwụ kpọrọ oku ka ha bịa zọpụta ya

mechara nukọrọ n’igwe laghachite azụ ka ha gwuso onye ahụ bịara ikpochapụ ha na eze ha. Ọtụtụ n’ime ha mụ ọkụ jidechaa mma, ụfọdụ bucha egbe e siri nke ọma, ndị nke egbe na mma erughị aka mụrụchaa ọkụ n’aka, buruchaa okpiri n’otu n’otu na-eso ndị ọzọ. Ozigbo ha batara n’ọnụụzọ mgbo Ọzọ Uruagwụ, ha nubaga ebe ahụ n’ike ka ha na Ọnwụha chịpụ ya. Mana tupu ha na-enubata, Ọnwụha akwaghariala ọnọdụ ya, ha were ọkụ chọgharịwa ya ebe ọ nọ n’ihi na aka ga-ahụgodu ntị tupu ọ mawa ya ọra. Ọtụtụ n’ime ha na-achọgharị ya na mbaraezi eze ha bụ Ọzọ Uruagwụ. Ụfọdụ chọrọ ya gaa n’ọba ya. Ndị ọzọ na-achọgharị ya ma n’obi ya, ma n’azụ ụlọ ya, na ebe ọbụla zoro ezo na be ya. Oge Ọzọ Uruagwụ chọputara na ndị obodo ya ejupụtala na be ya, o were nwayọọ meghee ụzọ, were ọfọ ya pụta gwa Nzeka ka ọ nọdụ n’ime ụlọ hapụ iso ya pụta. Oge ọ pụtara ọ rịorọ ha ka ha biko chọta nwoke ahụ ebe ọbụla ọ nọ gbuo ya n’ihi na a hapụ ya o dulaa ọtụtụ mmadụ na be ha mmụọ. Ha kwere n’ihe o kwuru ma gwakwa ya ka ọ

hapụ ha na ya ma baghachikwa na be ya n'ihi na ọ bụrụ na anwụ amagbuo onye a na-akọrọ ede ị mara na ọrụ a na-arụ enweghịzi isi. Ọzọ Uruagwụ baghachikwa na be ya were na-aṅa ntị mgbe mkpakala ga-amado ọzọdimgba. Ọtụtụ n'ime ndị ahụ na-achọ Ọnwụha n'ọba Ọzọ Uruagwụ na-amụ ọkụ na-achọgharị ya ebe niile n'ọba ahụ. Onye ọbụla ji nka were na-achọ ya maka ọ dịghị onye n'ime ha maara ebe ya bụ akpị zoro ma bulie ike ya elu were na-achọ onye ọ ga-agba.

Ọnwụajụase na ndị otu ya nọkwa n'ime ọhịa ebe ha zoro were na-anụ mkpọtụ dị iche iche ndị Dagburu na-eme mgbe ha na-achọgharị Ọnwụha. Nnukwu ụjọ ji ha ebe ha nọcha. Ha amaghịzi ihe ha ga-eme maka ha maara na ọ bụrụ na ha ewere abalị ahụ lawa, nnukwu anụọhịa na-egbu mmadụ nwere ike imesu ha n'ụzọ maọbụ ndị ajọ mmadụ na-akpagharị na-achọ isi ha ga-egbute nwekwara ike were ha gboo mkpa ha n'okporo ụzọ. Ha sịrị na nke kacha nke bụ na ọ bụrụ na ha siri ọnwụ bataruo Alaukwu, a ga-ajụrịrị ha ase banyere

Nzeka na Ọnwụha. Ọ bụrụ na ha akọwaghị nke ọma gbasara ha, obodo ha ga-elewa ha anya ọjọọ. Ọ bụ ihe ndị a kpatara ha jiri kwekọrịta na ha ga-anọ mara ihe ndị Dagburu na Ọnwụha ga-eje na otu Nzeka kpọ ha bịa ije siri gbaa ọsọ nke ya.

Ndị Dagburu chọkatara Ọnwụha, chọkata ya, otu onye were ọkụ hụ ya ebe o si n'elu osisi ọha ahụ o zoro were na-arịtu. Ọnwụha achọghị ka ha hụ ya n'elu osisi ọha ahụ ka ha ghara iji egbe gbara ya ihu kpuo n'ala. Tupu onye hụrụ ya na-etiri ọha obodo mkpu, Ọnwụha awụọlarị ọkpa naabọ n'ala were ọsọ gaa n'otu akụkụ ọchịchịrị gbara n'ọba ahụ zoo were na-eche ka agwọ daa kparakpata ka o were obejiri ya gbuo ya kparakpata. Mwutu Ọnwụha wuturu na ọsọ ịba ndị Dagburu na-achọ ya n'ọkpa, bụrụ otu. Onye gbata, ọ ghaa ibe ya n'ihi na o nweghị onye ndụ ya adịghị mma. Onye ọbụla n'ime ha si n'akụkụ ọba ahụ gbapụchaa maka na oke ọbụla na-agba igbudu okirikiri chọrọ ịda mbadamba. Ọ dịghị onye egwu kwere baa n'ime ọba ahụ

maka ọ dịghị onye ga-ahụ ọnwụ ya gawa ka o gbuo ya. Mgbe ndị mmadụ tụkatara egwu ije jide Ọnwụha n'ime ọba ahụ ọ nọ, otu nwoke a na-akpọ Nwokekaibeya ṅụjuchara mmanya afọ n'abalị ahụ, pụta sị ndị be ha ma ọ bụkwa otu dimkpa ka ha niile na-asọ adanyecha n'ọkụ, ka o nwere ihe ọzọ. Na ọ bụ ihe ihere na otu onye siere ha nri na-ekweghị ha nricha. Ozigbo Nwokekaibeya gwachara ndị be ha ihe a, o were iwe gbara ọsọ kwobaga n'ọba ahụ. Ka ọ na-etibata, nwoke a bụ Ọnwụha were obejiri ahụ o ji mewe ya ihe ahụ mma na-eme osisi kwụchiri ụzọ. Nwokekaibeya tachite obi ya maka mma ahụ ọ na-egbu ya, were ike dimkpa ya tinye isi buru Ọnwụha tie n'ala. Ọnwụha nọrọkwa n'ala ebe ahụ Nwokekaibeya ji ya jidesịa Obejiri ya ike, ma werekwa eze na-ekpe Nwokekaibeya ekwere n'ahụ ya niile. Oge Nwokekaibeya hụrụ na Ọnwụha chọrọ ka o soro ya laa mmụọ, o tie mkpu akwa were ọsọ tụhapụ Ọnwụha ozigbo, rie mbọmbọ ọsọ. Ndị Dagburu gbara ọsọ na-abịa ka ha soro Nwokekaibeya jide Ọnwụha gbaghachikwara

azụ ka ha hurụ Nwokekaibeya ka o tiiri mkpu akwa si n'ime ọba ahụ gbapụta. Ahụ ya nile bụrụ naanị ọbara ọbara. I lee ya anya n'ahụ, isi ebuo gị ma ị hụchaa ihe Ọnwụha ji mma na eze were mee ya n'ahụ. Onye ọbụla bido zewe onwe ya ka onye ha amaghị onye ọ bụ ghara iri isi ha.

Oge Ọnwụha hụrụ na ndị na-achọ isi ya agbaghachila azụ, o were obejiri ya maa elu ọba ahụ si ebe ahụ, matuo n'ala, wee gbawa ọsọ ndụ ya ka agwọ e gbutere mma ka o tinye isi n'ọhịa. Ọnwụ chọọ igbu nchi, ọ kpapụtara ya dinta n'etiti ehihie. Ozigbo ndị Dagburu hụrụ na Ọnwụha esila n'ime ọba ahụ mapụta gbawa ọsọ, ụmụokorobịa, ma ndị bu egbe, ma ndị ji mma, ma ndị bu okpiri, were chụwa ya ka dike na dike naa aka mma. Mgbe Ọnwụha na-eme ike ya niile n'ọsọ ahụ ka otu nwoke ọzọ a na-akpọ Ọnwụbụarịrị chụkwudoro ya wee mịrị mma ya tụkwasa ya Ọnwụha n'azụ. Ọnwụha were obejiri ahụ o ji n'aka daa n'ala gwoo, Ọnwụbụarịrị dakwasa ya ebe ahụ. Ọnwụha maara na isi ya eruola

ala mana ọ chọghị ka ọ gbara aka were laa mmụọ, n'ihi na ọ bụrụ na arụsị na-eri asaa erighị asaa, anya anaghị edo ya. Ọnwụha nọ n'ala ebe ahụ Ọnwụbụarịrị jidere ya were eze ya gbawa ya akpụkpọ. Mgbe Ọnwụbụarịrị chọputara na Ọnwụha chọrọ iri isi ya tupu ọ nwụọ, o jidesie ya ike bido tiwe mkpu ka a bịa nyere ya aka. Ozigbo, ụmuokorobịa buuru okpiri ha na mma ha gbara ọsọ bịa, Ọnwụbụarịrị tụhapụ Ọnwụha, waliri gbapụ nwa obere ọsọ, gaa n'otu akụkụ kwụrụ ọtọ. Ọnwụha sikwa n'ala ọ nọ waliri ka ọ malitekwa ọsọ ndụ ya, ụmụokorobịa wee were ogologo okpiri ha jicha kụwa Ọnwụha ka ha kụgbuo ya, maka na anụ ahụ ya bụ naanị ogwu ogwu ma n'onya, e were okpiri kụgbuo ya. Ka ha na-akụ ya okpiri ahụ, Ọnwụha werekwa obejiri ya na-eme ha ire n'ahụ. Oge ha kụturu Ọnwụha n'ala, Ọnwụbụarịrị sikwa ebe ọ nọ were iwe na ọnụma gbara ọsọ ga makwasa Ọnwụha n'ahụ ọzọ nara ya obejiri ahụ o ji emesi ndị be ha ike tụpụ. A narala akpị ihe ahụ o ji eme ire, ugbua ya na ụkpana bụzi otu. Ndị Dagburu

wee were mma ha jicha gbutọrịa Ọnwụha n'ala ebe ahụ ọ nọ, ozu ya tọgbọrọ. Ụta gbatara eleke ntịọba rie ọgụ mkpụrụ akụ! Oge ha hụrụ na Ọnwụha anwụọla, aṅụrị juru onye ọbụla obi, ha na-ekele Ọnwụbụarịrị maka ike ọ kpara ka dike. Ndị Dagburu niile wee nọrọ ebe ahụ bido tuwe ya aha 'Ukpaka gbajiri igwe'.

Ndị dimkpa Dagburu buuru ozu Ọnwụha ahụ n'isi ozigbo gụrụ egwu gawa n'obi Ọzọ Uruagwụ. Ha bata buru ozu ya ga dowe ya n'etiti obi ahụ, were ọkụ mpanaka ha jicha dọwachaa okirikiri ozu ahụ ka e were na-ahụ ya nke ọma. Ọzọ Uruagwụ na Nzeka pụta kelewa ha. Ọzọ Uruagwụ malitere tuwe ha aha, "Dagburu ji otu obi eme ihe! Dagburu, obodo dike na-atụ egwu!! Dagburu, unu bụ gaaga n'ogwu!!!, Anụ kpọrọ nkụ na-eju ọnụ!!!! Unu bụ obodo nwere ndị dike a na-akpa ogwu n'anya!!!!! Ọ bụ ụdịrị omume a unu na-eme kpatara o ji atọ m ụtọ na mụ bụ onye Dagburu, were na-atụrụ Chineke mma mma kwa ụbọchị ọbụla otu o siri kenye m

n’obodo a bụ Dagburu. Jidekwanụ ka unu ji n’ihi na unu na-eme nke ọma.”

Oge o tuchara ha aha ndị ahụ, o were kpọpụta Nzeka wee kọwaara ndị be ha otu Nzeka na mmadụ anọ ndị ọzọ gbara ọsọ ndụ ha siri kpọrọ nwoke ahụ ozu ya tọgbọ n’ihu ha were si Alaukwu bịa ka ha jụta agbara ma nwoke ahụ o so gbuo onye a kpọrọ ya aha na o soro gbuo were na-agọ agụgọ. Ọ sịrị ha na ọ buzị oge ha na-aṅụ mmanya ka nwoke ahụ mịịrị mma otu onye n’ime ndị kpọọrọ ya bịa dowere n’elu oche were chọọ iwere ndụ ha n’otu n’otu, onye ọbụla zọwa isi onwe ya. Mgbe ndị ọzọ gbafuchara, o were mma ya bịazịa ka o gbuo ya na enyi ya nwoke Eze Ụzọemezie zitere, bụ onye nke kpọ ndị ọzọ were bịa Dagburu. Mana Chukwu emeela ọbịara ka o gbuo ha were gbuzịa onwe ya. Oge Ọzọ Uruagwụ gwachara ndị obodo ya okwu. Nzeka kelekwara ha nke ọma otu ha siri gbuo onye chọrọ ịnara ha ndụ ha. Ọzọ Uruagwụ kpọrọ ndị odibo ya baa na be ya sị ha bupụtachaa mmanya niile o nwere n’obi

ya. Ọ gaa n'ụlọ ewu ya kpụpụta ewu atọ gbara agba gbuo ha, keere ha ndị nwunye ya atọ sị ha were ha siwe ihe n'abalị ahụ, ha sichaa ka ha bupụta ihe ha siri n'obi ya ka ndị be ha zọrọ ya ndụ were nwewe obi ụtọ. Ọ gwara ndị niile Ọnwụha gbutere mma n'ahụ ka ha soro Ọnụọha gaa na nke ya gaa nara ọgwụ. Ọ sị Ọnụọha kpachapụ anya mechie ha ọgwụ na mma e gburu ha na arụ a tara ha. Na ihe ọbụla ego ya pụtara ka ọ gwa ya. Ha na Ọnụọha yịrị gawa na nke ya ozigbo. Ha bataruo, o nyechaa ha mmiri ha were ghụpụchaa mmee dịcha ha n'ahụ. Ọ gwọkọchaa ọgwụ dị iche iche techaa ha ebe ahụ Ọnwụha gbutechara ha mma, na ebe ọ tachara ha arụ. Ọ gbarakwa ọgwụ nke mmiri gbanyechaa ha n'otu n'otu ha ṅụchaa. O werekwa nke ahịhịa ha ga-ata ma chi fo nyekwa ha.

Oge o mechara nke a, ha niile laghachikwa n'obi Ọzọ Uruagwụ. Ọnụọha bụ oke dibịa anwụrụ ọkụ na-apụ n'isi ndị Dagburu nwere. O nweghị ụdịrị ahịhịa na mgbọrọgwụ dị

n'ọhịa e ji agwọ ọgwụ ọ maghị anya ya. Ọ na-agwọrọ ndị mmadụ ọgwụ ha ji eme ihe dị iche iche ma na-agwọkwụazị ọrịa dị iche iche.

Oge ha gaghachiri n'obi Ọzọ Uruagwụ, aṅụrị ihe ndị be ha mere na-arị ibe ya elu. Ihe oriri na mmanya bụ atụrụ tawa. Onye rikata nri, ṅụkata mmanya, takata anụ, o jiwe onwe ya eji maka Ọzọ Uruagwụ gwara ha na ha ga-erikata ihe ọbụla ha chọrọ na be ya tutu chi efo. Ọ bụ onye ọbụla n'ime ha rikatara gbawa ọsọ ka ihere ga-abụ nke ya. Ha na-eri oriri ahụ, na-agụ egwu ọṅụ, were na-eche ka chi fo ka ha wee mara ihe ha na ozu Ọnwụha ga-eje.

## Isi Nke Isii

## ỤRA TỌWA ỤTỌ E KWOWE YA EKWO

Ka chi foro nke ọma, aṅụrị wee bụrụ ‘eji eme gịnị’ na Dagburu. Ebe niile na-ahịọ ahịọ, na-azụ azụ na e gbuola nwoke ahụ bịara na be Eze ha bụ Ọzọ Uruagwụ ka o gbuo ya. Ụmụokorobịa si n’obi Ọzọ Uruagwụ bupụta ozu Ọnwụha na mbaraezi ya, tọgbọ ya ebe ahụ ka ụwa hụ ya anya. Ndị Dagburu niile gwụrụ n’ụlọ n’ụtụtụ ụbọchị ahụ ka ha ga were anya ha abụọ hụrụ ozu nwoke ahụ menyere ndị be ha egwu. Ihe niile na-eku ume a kpọrọ mmadụ n’obodo Dagburu, ma nwoke, ma nwaanyị, ma okenye, ma nwata, ma obere, ma nnukwu, ma oke, ma ngwere, hapụchara be ha n’ụzọ ụtụtụ ahụ, nukọrọ gawa na be Ọzọ Uruagwụ ka ha were anya ha mata ma ihe ahụ ha nụrụ na ntị ọ bụ eziokwu. Onye gbarute, ọ na-ele ozu Ọnwụha ebe ọ tọgbọ na mmee jụpụtara ya ahụ, na anya ọ na-eti gbaa ka onye nọ ndụ.

Ka ndị mmadụ gbara okirikiri na-ekiri ozu Ọnwụha, Ọzọ Uruagwụ were oche ga nọdụ n'otu akụkụ na-ele n'anya ihe na-aga. Maazị Nzeka nọnyekwaara ya n'akụkụ, dụnye aka n'agba na-ekiri ihe ndị Dagburu na ozu Ọnwụha Ọgụdiru ga-eje. Nzeka nọ ebe ahụ mana ọ bụghị ya nọ. Ahụ ya tukwu ebe ahụ mana echiche ya esoghị ya tukwuru. Ebee ka echiche ya niile dị? N'ebe ndị ya na ha sooro bịa Dagburu nọ. Ọ maghị ma ha nọ ndụ ma ha nwụrụ anwụ.

Oge ndị mmadụ kirikatara ozu nwoke a a sị na ọ bịara ka o gbuo eze ha na ndị be ha, ụmụnwaanyị gbakọọ ozigbo bido gụwa egwu mmeri, egwu ọṅụ, egwu obi ụtọ maka ihe chi ha meere ha, ndị obodo ha were gbuo onye bịara ka o gbuo ha, Ha bidoro n'isi na-etu ndị niile ahụ kpara ike dị egwu ịhụ na edi sọrọ nwoke ahụ buuru ọgụ bịa na be ha, aha. Ha gụụrụ egwu ahụ gaghariwa n'obodo ha niile. Ha gụọ egwu, gụọ egwu, ha akpọkuo Ọzọ Uruagwụ tuo ya aha n'egwu ha na ọ bụ ya bụ ***Akajiọfọ*** ụwa maara maka ya, na ọ karịrị

mmadụ igbu ya. Onye ọbụla bịara ka o gbuo ya bụ ọnwụ ka ọ chọrọ. Ụmụagbọghọbịa n'onwe ha gbakọkwara ọnụ n'otu akụkụ na mbaraezi Ọzọ Uruagwụ na-agụ egwu na-agba, na-etu ụmụokorobịa ndị be ha bụ dike aha dị iche iche na-atọ ụtọ na ntị ma a na-anụ ha. Ụmụaka na-agbagharịkwa n'ebe ahụ niile na-eme ụzụ n'ụdịrị nke ha iji gosi na ha so nọrọ ya, ma ndị ma ihe a na-akọ, ma ndị amaghị.

Mgbe Ọnwụajụase, Ikebụọnwụ, Ọnwụka na Ọgụagbaka nọọrọ ebe ha zochara nụ ihe na-akpọtụ na mbaraezi ndị Dagburu, ha mata na Ọnwụha Ọgụdiru aghọọla ozu. Kama, naanị ihe uche ya kacha ata ha mmiri n'ahụ bụ na ha amaghị ma mmiri ọ bakwuru Maazị Nzeka na ntị. Obi agaghị adị ha mma ma ọ bụrụ na ha ahụghị Nzeka kpọ ha were bịa ije. Maka ọ bụrụ na ha nwaa anwa laruo Alaukwu, ma ha amaghị otu Nzeka siri gaa, obi ga-agbọwacha ndị be ha ma e were onye dị ka Nzeka na-akọrọ ha akụkọ enweghị isi na ọdụ. Ndị be ha ga-ele ha anya ọjọọ otu o

siri bụrụ naanị Ọnwụha na Nzeka ka ndị Dagburu jidere gbuo mana ọkọ ọbụla akọghị ha.

A sị na ọ bụ e loo ndụ n'afọ were lụo ọgụ, a bụrụ dike. Ha mechara kwekọrịta na ha ga-achọrọ Maazị Nzeka gaghachi n'obi Ọzọ Uruagwụ. Ọ nọrọ ndụ, ọ nwụọ anwụ, ka ha mara. Ọ bụrụgodu na ha ruo ebe ahụ aka kpara ha, na tupu o mee mkpụrụ ụbọchị abụọ ndị be ha ga-ajụrịrị ase ha, ebe ọ bụ na ọ bụghị n'ọhịa ka ha siri pụta. Ha were egbe ha na mma ha zochaa n'ime ọhịa n'ihi na ha kwetara na ọ dịghị mgbe ndị Dagburu ga-ele ha anya ọma ugbua obodo ha na-ada gharaghara, ma ha hụ ndị ha amaghị ndị ha bụ ka ha kocha egbe na mma n'otu n'otu aga na nke eze ha, n'ihi na osisi anaghị adụ nwoke ugboro naabọ n'anya. Ha chekwara na ọ bụrụgodu na ha agbara aka bata na be Ọzọ Uruagwụ na a ga-ele ha anya ugboro abụọ n'ihi na onye agwọ tara na-abụ ọ hụ isi ngwere o nyowe ya enyowe, maka ọ bụghị onye aṅụ gbachara hụ okporoko ijiji ọ nabata

ya. Mana ha sịrị na ihe dị iche ga-adịrịrị ma ha kụchara aka na ọkpa bata na be Ọzọ Uruagwụ karịa ha ijiri egbe na mma n'ihi na e jighị mkpume egwusa onye isi nkwọcha, egwu. Ha mechaa kaa obi were gawa n'obi eze ndị Dagburu bụ Ọzọ Uruagwụ n'ihi na nkwenye ha bụ na ọ bụrụ na isi nwoke adaghị n'ala, o koro n'elu.

Mgbe ha zọbatara ọkpa na mbaraezi Ọzọ Uruagwụ, mmadụ bụ aja dị n'ala ebe ahụ. Ebe niile juru eju. Ụzụ na-atụ n'elu, na-atụ n'ala. Ndị Dagburu jupụta ebe niile. Ọ dịghịzi onye ma onye. Ndị na-abata abata, ibe ha ana-apụ apụ. Oge Ọnwụajụase na ndị otu ya batara na nke Ọzọ Uruagwụ, ọ bụ ụfọdụ ndị Dagburu maara na o nwere ndị dị iche batara n'etiti ha. Ha lee ha, lee ha, ha akpatụrụ ibe ha nọ ha nso were anya gbaara ha izu. Ụfọdụ bụkwa ndị na-eche na onye ọbụla bịara ebe ahụ n'ụtụtụ ahụ bịara ka ọ hụ onye ahụ chọrọ igbu eze ha ma werekwa ohere ahụ kelee Ọzọ Uruagwụ otu o siri merie ọnwụnwa bịaara ya. Ebe ọtụtụ n'ime

ha weere onye ọbụla bịara ebe ahụ dị ka mmadụ ibe ha. Ha anaghị ajụ ase ebe onye ha ahụbeghị mbụ siri bata Dagburu na ihe ọ chọọrọ bata, naanị ihe ha maara bụ na ọtị dị n'anụ bụkwuazị anụ n'ihi na onye ọbụla a hụrụ na Dagburu ụbọchị ahụ bụ onye Dagburu maọbụ onye ihe ndị Dagburu na-amasị.

Ihe izizi kpọrọ Ọnwụajụase na ndị otu ya ihu bụ ozu Ọnwụha Ọgụdiru ebe a tọgbọrọ ya tinyekwara apa mma na ọkpụrụkpụ mmee jupụtara ya ahụ niile. Ha hụkwara ndị mmadụ gbara ya gburugburu na-ekiri ya. Onye kirichaa ya pụta, o soro ibe ya nwewe aṅụrị. Ha were nwayọọ lee ya anya ebe ahụ ọ tọgbọ, kwee n'isi n'ihi na ọchọ ihe ukwu ahụla agba enyi. Ha gbachị nkịtị mee anya ka ha ahụghị ya were chọrọgodu Nzeka ha jiri maka ya bịawa n'obi Ọzọ Uruagwụ, gawa. Mmadụ anaghị anọ n'ụlọ mara ihe zụrụ n'ahịa. Ọ bughị otu ha siri chee na ije ha ga-adị ma ha tụọ ọkpa na mbaraezi eze ndị Dagburu ka o siri dịrị ha. Ka ha batara na

mbaraezi Ọzọ Uruagwụ na-akpaghari̩, Okeke maọbụ Okafọ atụpụghịrị ha ọnụ ma ya fọdụzịkwa ibitụ ha aka n'ahụ. Ha hụrụ Ọzọ Uruagwụ ka ọ nọ n'oche eze ya, ndị mmadụ gbaa ya okirikiri na-ekele ya, na-etu ya aha otu o siri nọrọ be ya nọgbuo ekwensu biara nwaa ya. N'ezie, ị bata obodo a na-ebe ntị, naanị ihe ị ga-eme bụ i berekwuo ntị gị tọgbọ. Ọnwụajụase na ndị otu ya gawa ozigbo ka ha sorokwuo ndị Dagburu kelee Ọzọ Uruagwụ. Oge ha ruru ebe ahụ ọ nọ, ha chọpụtara na uzere enyerela ntịhie aka. Ha hụrụ Maazị Nzeka ebe ọ dụnyere aka n'agba nọrọ n'akụkụ Ọzọ Uruagwụ na-ele naanị n'anya n'anya, maka nwata hụ ihe karịrị ya, ọnụ atachie ya. Igbo kwuru okwu sị na uche naabọ ekweghị onye ọrịa rie ihe o nwere. Ọ dịghị onye maara ma ọ bụ Ọnwụajụase na ndị otu ya ka Nzeka kpọkwu n'oche were na-eche ma ha nọzịkwa ndụ, ka ha nwụrụ anwụ, ka ọ bụ ụdịrị ọnwụ ọ gaara ịnwụ ụnyaahụ n'aka Ọnwụha Ọgụdiru ka ọ na-eche maka ya.

Ozigbo ọ hụrụ Ọnwụajụase ha, o si n’oche ya malite makụo ha n’otu n’otu na-ekele ha, na-ekelekwa chi ha otu mmiri ahụ erughị eru esighị maa ha. Ọzọ Uruagwụ nabatakwara ha nke ọma, mana ohere ha na ya ịkparịta nkata otu ha na ọsọ ndụ ha siri jee na ebe ọsọ chụjere ha amapụtaghị, n’ihi na ndị Dagburu na-abịa ekele ya ekweghị ya hụ ụzọ. Ndị be anyị kwuru okwu sị na ọ na-abụ ọgụ karịa ọgụ ndị avgbajiri aka akọwa maka ndị a gbajiri ọkpa. N’ihi ya Ọnwụajụase na ndị ọzọ sooro ndị Dagburu kelewe Ọzọ Uruagwụ maka otu chi ya siri gbatara ya ọgụ. Ọzọ Uruagwụ ziri ozi, e butere ha oche ha nọnyere Maazị Nzeka n’akụkụ ebe ahụ ọ nọ were na-elepụ anya. Ha enweghị ọnụ okwu ịkọrọ Nzeka otu ha na ije siri ga. Nzeka n’onwe ya achoghịkwa isaghe ọnụ kwuo ihe ọbụla banyere otu ya bụ odu siri zee akụ tutu ha ewerekwa ọkpa ha laruo Alaukwu, ndị ziri ha ozi ahụ ha anya.

Ngwere nyụchaa nsị, ọ nyụnyeghị ya nzu ị mara na ọ bụghị ngwere nyụrụ ya. Oge Ọzọ

Uruagwụ hụrụ na ndị niile chọrọ ịhụ ozu Ọnwụha ahụchaala ya, o si n'oche ya kulie were gwa ndị be ha okwu. Ọ gwara ha ka ha kpọkọọ ụmụnwoke niile a mụtara na Dagburu, ma nwata, ma okenye, onye ọbụla chi ya kere ọ pụta ụwa na Dagburu bụrụ nwoke, ma ụmụnwoke ndị e ku n'aka, ma ndị na-aṅụ ara. A gwara ụmụnwaanyị ka ha were nwayọọ laghachiwezie n'ezinaụlọ ha siri pụta n'otu n'otu n'ihi na o ruola mgbe ọganigwe Ogbunka ji eme mmọnwụ. Naanị ụmụnwoke, ma nnukwu ma obere, jupụtara na mbaraezi Ọzọ Uruagwụ. Nwatakịrị nwoke nke agaghị akwụnwu ọtọ, nna ya ekuru ya n'ahụ. Ha niile gbara ozu Ọnwụha okirikiri were na-aṅa Ọzọ Uruagwụ ntị n'olu. Ọzọ Uruagwụ gwara ndị nwoke niile nọ ebe ahụ na-egbutebeghị isi mmadụ, bido n'okonye tọchara ha niile wee ruo na nwatakịrị nwoke a mụrụ n'anyasị ụbọchị ahụ, ka ha were mma, were nwayọọ na-egbutụrụ ya n'ozu Ọnwụha ahụ tọgbọ n'ala iji gosi na ha egbuola isi. N'oge ahụ, ihe e ji ama dike na Dagburu bụ isi mmadụ ole o gbuterela

n'ọgbọ ọgụ maọbụ ebe ọbụla okwu na-aha ọnụ. Onye egbuteghị mmadụ n'oge ahụ abụghị nwoke e ji anya isi. Ọ bụ nnukwu iwu na onye ahụ agaghịkwa eso gbaa egwu ikoro ma ọ dawa. N'ihi na ọ bụ omenaala gbanyere mkpọrọgwụ na be ha mgbe ahụ na onye ọbụla ga-agba egwu ikoro ga-egburịrị isi maka na a naghị agba aka aza dike.

Oge ụmụnwoke ndị ga-ejidenwu mma aka, ndị egbubeghị isi, weere mma gbụtụchaa n'ahụ Ọnwụha, ndị kpọ ụmụnwoke ndị a gaghị ejidenwu mma, ma ndị ku ndị a naghị aga ije, ndị na-aṅụ ara na ndị a mụchara ọhụrụ weere aka ha jidechaa na mma, were gbutụ n'ozu Ọnwụha nke gosipụtara na ha abụrụla dike n'ihi na ha egbuola isi. Mgbe ọbụla ha tolitere na Dagburu, ha esoro ibe ha gbawa egwu ikoro n'ihi na ha amarala ihe ibe ha maara. Mgbe ha mechara emume nke a, ndị nna kulara ụmụntakịrị ndị dị mma nkula were lọghachitekwa azụ maka ihe ọzọ ga-esota. Maazị Nzeka na ndị otu ya nọkwa ebe

ha nọ were na-ele n'anya ijiri mara otu a ga-esi kapịa okwu niile ọnụ.

Mgbe Ọzọ Uruagwụ hurụ na ha egbutụchaala ozu Ọnwụha mma, o were kpọpụta ndị na-egbu anụ a maara n'ala Dagburu, ndị maara nke ọma ka e si agba anụ akpụkpọ, ka ha gbaa Ọnwụha akpụkpọ. Ha were ọsọ gaa na be ha n'otu n'otu ga wetachaa ihe ha ji agba anụ akpụkpọ. Ka ha lọghachitere, ha were ozu Ọnwụha mee ihe ha mụrụ amụ. Ha weere akpụkpọ ha gbapụtara n'ahụ Ọnwụha ga kosagodu na be Ọzọ Uruagwụ. Ihe ọzọ ha mere ka a gbachara ozu Ọnwụha akpụkpọ bụ na ha weere mma bepụ ya isi ga dowe ya na n'okwu arụsị Ọzọ Uruagwụ. Ọzọ Uruagwụ gwa ha ka ha bọkaa ozu Ọnwụa ozigbo. O zikwara ụmụodibo ya ozi, ha gaa n'usekwu ndị nwunye ya butere ụmụdimkpa akwụkwa igwe na otu nnukwu ite e ji esi ihe, na nkụ, maka iji were sie anụ Ọnwụha. Ka ha bọchara anụ ya, ha kporo mgbịrịma afọ ya chịfuo. Ha were anụ Ọnwụha ahụ wụjuo n'ite

were malite siwe ya. Ụfọdụ ndị dimkpa ka a họpụtara ka ha nọdụ na-ahụ maka osisi anụ ahụ ebe ndị ọzọ ji obi ụtọ gụrụ egwu na-azọgharị na mbaraezi Ọzọ Uruagwụ niile were na-eche mgbe anụ ga-eghe ka oriri bụrụzịa bịambịam n'ọnụ.

Ọ bụrụ na ọgaranya ejeghị mba, ọ naghị ama na o nwere onye ka ya. Maazị Nzeka, Ọnwụajụase, Ikebụọnwụ, Ọnwụka na Ọgụagbaka abịala mba were hụ ihe ka ha. Ha dụnyechara aka n'agba were na-ele ihe ndị Dagburu na ozu Ọnwụha na-eje n'ihi na ọ naghị abụ a hụ nwammụọ, e ghewe ọnụ oghe.

Ka ndị dimkpa na-esi anụ Ọnwụha sikatara ya, otu onye n'ime ha were eku ha ji akpagharị ya detụ n'ire ya ka ọ mara ma ụtọ ihe ha na-esi ọ pụtawala. Ọ gbarụrụ ihu ozigbo ọ rachatụrụ eku ahụ. Ndị ha na ya na-esi anụ ahụ jụọ ya sị, "Nwoke, nke a ị na-agbarụ ihu ka onye tara akịilu, ihe anyị na-esi

ọ dịkwa ụtọ?" Nwoke ahụ ekwughị okwu, naanị ihe o mere bụ na o weere eku ahụ o ji n'aka nye ha ka ha soro ya hụ ihe ọ hụrụ n'ihi na agwọ naanị otu onye hụrụ na-abụ eke. Ha nara ya eku ahụ, kpughee ite anụ ahụ, kpagharịa anụ ha na-esi. Ihu ha dịcha ka nke onye ṅụrụ ọgwụ ịba mgbe ha rachatụchara mmiri anụ ahụ n'otu n'otu. Ha chọpụtara na ọ na-elu ilu karịa mmiri onugbo. Ihe ọzọ ha mere bụ na ha gbakọrọ aka ọnụ were fọtuo ite anụ ahụ n'ala, were nwayọọ zapụchaa mmiri izizi ahụ ha ji esi ya, buru ya ga kwafuo. Ha gbanyekwa ya mmiri ọzọ wee bidokwa siwe ya n'ihi na anyasị amaghị onye dị ọcha. Ha kwanyere ya ọkụ nke ọma ka ha hụ na ihe ha sinyere ghere nke ọma. Ọzọ Uruagwụ nọkwa ebube ebube n'oche eze ya were na-eche mgbe anụ e sinyere n'ọkụ ga-eghe maka ewu ahụ hụrụ ya were puo mpi na ọ ga-eji mpi ya ṅụọ mmanya. Ọ bụ mmiri nke abụọ ahụ ha gbanyere na ya ka ha jiri sighee anụ Ọnwụha ahụ.

Oge ha fọturu ya n'ala, ha gara kpọtụrụ Ọzọ Uruagwụ ma mee ka ọ mara na ihe ha na-esi egheela. Ọ gwara ha ka ha kpọọ ndị gụụrụ egwu na-agaghari n'obodo Dagburu ka e bido kewe ya bụ anụ ozigbo maka e gbuo mbekwu dowe ya ọra, abụba ya alaa. Ozigbo mmadụ niile zukọrọ, ndị ahụ siri ya bụ anụ bido kewe ya. Ha bu ụzọ tinyere Ọzọ Uruagwụ anụ na mmiri anụ nke ya n'afere ga bunye ya. Anụ ahụ na-aha mmanụ karịa anụ ezi n'ime afere ahụ e tinyere ya. Ọzọ Uruagwụ naara ha oke nke ya wee bido kwanyeba akụ n'ọnụ. Ọ taa anụ ahụ, taa anụ ahụ, o kwee n'isi n'ihi na oke osisi ahụ hụrụ ya were tewe nkwe, oke ikuku nyeere ya aka kwara ya tọgbọ n'ala, o were rịa ya elu ma kpara ya nkụ. Ha wetakwaara Nzeka na ndị otu ya oke anụ nke ha, mana ha jụrụ na ha agaghị eri n'ihi na o nweghị mgbe ọnụ ga-ekwe ha rie anụ Ọnwụha ha maara nke ọma, mara nwunye ya na ụmụ ya, mara ikwu ya na ibe ya. Ọjụjụ ha jụrụ dị ndị ahụ na-eke ihe

obi mma n'ihi na ọ bụ ihe ha na-achọ ka ha hurụ, ka anụ wee tụọ ndị chọrọ iri ya akpịri. Ha e bido kewe anụ ahụ ka o rutu onye ọbụla. Ọ dịghị nwoke nọ ebe ahụ chọrọ iri anụ ahụ o rtụghị. Onye na-ata ya, ọ na-akọ ọkọ n'isi iji were gosipụta otu o si were na-aba ya n'ụmị ọkpụkpụ. Ọ dịghịkwa nwaanyị ọbụla detụrụ ya ọnụ n'ihi na ha kwetara na ọ sọrọ nwaanyị nsọ iri anụ mmadụ na be ha. Oge ndị na-eke ih kechara ihe, Ọzọ Uruagwụ were gwa naanị ndị okenye ka ha bịaghachi n'oge mgbede ụbọchị ahụ maka ịkpụkpụ isi anụ ha tara.

Ka ha richara anụ ahụ, ṅụchaa mmiri ya, kelechaa Ọzọ Uruagwụ, onye ọbụla tinye isi n'ụzọ be ya n'ihi na ọbịara ije nwe ụla. Mgbe Nzeka na ndị otu ya hụrụ na dibịa agbachaala ihe ọ na-agba n'afa, Maazị Nzeka kulie gwa Ọzọ Uruagwụ na ha ga-alaghachi Alaukwu ka ndị zitere ha marakwa otu ha siri jee. Ọzọ Uruagwụ gwara ha lawa, na nsogbu ọbụla adịghị, na ọ dịghị ihe ga-eme ha. Ọ sị ha ọ

bụrụ na ha laruo Alaukwu, ha kọọrọ enyi ya nwoke bụ Eze Ụzọemezie otu o siri zenahụ ọnwụ si Alaukwu bịa ka o gbuo ya. Nzeka ha kelere ya nke ọma were chọrọ ụzọ ha siri bịa lawa. Ọnwụajụase, Ikebụọnwụ, Ọnwụka na Ọgụagbaka pụta n'ụzọ ebe ha zochara egbe ha na mma ha, ga wetachaa ha, pụtakwa, ha niile turu ụzọ lawa.

Ka ha lawara, Ọzọ Uruagwụ baghachi na be ya ga zuwe ike, ụmụodibo ya ga bughachichaa ihe niile ahụ e jiri sie ihe, kpọchapụchaa ihe ndị dị mma mkpochapụ, were azịza zachasịa mbaraezi Ọzọ Uruagwụ nke ọma, ọ na-eti gbaa ka ebe ọ dịghị ihe a nọrọ na ya mee. Mbaraezi ahụ jụkwara oyi n'ihi na ndị niile jupụtara ebe ahụ alaruchaala ụlọ ha ka ha zuo ike maka anya abalị ha mụrụ, na mmemme ha mere sochiri abalị ụbọchị ahụ, azụ.

Igbo sị na ọ na-abụ a na-ekwu na oke tagburu mmadụ, ngwere achịrị ihe gawa ịwa eze. Ka

chi ehihie gbara ụbọchị ahụ, isi Ọnwụha Ọgụdiru ahụ e dowere n'okwu arụsị Ọzọ Uruagwụ bido tawa ikikere eze, ***'kirikiri, kirikiri, kirikiri,'*** Ụjọ jidere ezinaụlọ Ọzọ Uruagwụ niile, ma nwoke, ma nwaanyị, bi na ngwuru ya. Mgbe Ọzọ Uruagwụ nọ n'ime be ya nụ ikikere eze ahụ isi Ọnwụha na-ata na n'okwu arụsị ya n'etiti ehihie ahụ, ụjọ jidere ya maka onye akpị gbara hụ ụkpana, o kee nkwụcha. O si ebe ọ nọ kulie were bido tiwe onwe ya mmọnwụ n'ime ụlọ be ya ahụ. Oge ọ kwadochara onwe ya n'ụdịrị mmadụ, na n'ụdịrị mmụọ, o were aka kpara ọfọ ya, kwaghee ụzọ ya pụta, gawa ebe ahụ okwu arụsị ya dị ka ọ ga mara ihe bụ iwe isi Ọnwụha o ji eyi ya na ndị be ya egwu n'etiti ehihie ahụ. Ọ bụ eziokwu na Ọzọ Uruagwụ kwadoro nke ọma tupu ọ pụta, mana ụjọ jidere ya mgbe o ruru ebe ahụ hụ ihe Ọnwụha na eze ya na-eme.

Mana Ọzọ Uruagwụ gbachiri nkịtị ka dike, kwụrụ n'akụkụ okwu arụsi ya ahụ na-ele ya

n’ihi na o kwetara n’obi ya na anụ enweghị agba anaghị aja eze. Mgbe ọ kwụ ebe ahụ na-eche ya ka ọ mara ma o nwere otu ya bụ mbe ga-esi gbaa ụtịrị, ka ndị dimkpa atọ ndị agbatobi ya ji mmaoge kwobata na ngwuru ya were hụ ebe ọ kwụ n’akụkụ okwu arụsị ya. Ha garuo ebe ahụ kelee Ọzọ Uruagwụ, were jụwa ya ihe butere ụdịrị ikikere eze ahụ isi onye ha tacharala anụ ya na-ata. Ọzọ Uruagwụ were sị ha enyela nsogbu ọbụla n’ihi na nte agaghị atụ. Ọ gwara ha ka ha laghachi na ọ dịghị ihe ọbụla ga-eme maka ijiji ma ụma atụ nkwe n’ikpo nsị, ọ dịghị ihe ọ bụla ọ ga-emenwu ya. Ọ dịghị otu Ọzọ Uruagwụ siri gosipụta na ụjọ na-atụ ya n’ihi na ọ bụ nka ka e ji eme mmọnwụ.

Ọ gwara ndị dimkpa atọ ahụ na ihe o jiri mara na okwu ahụ erijughị afọ bụ na ọ bụ ihe enyi hụrụ gbawa ka mbekwu hụrụ wakwawa ọgọdọ. Ọ dịghị ihe ọbụla Ọnwụha n’onwe ya mere ya, o wee bụrụ isi ya ka ọ dị ka ọ ga-agatanwu ya mbọ. O kwuru na nke ahụ

agaghị ekwe omume n'ihi na o nweghị ihe mbazu ga-emenwu ukwu ọjị. Oge ndị dimkpa atọ ahụ laghachiri na be ha, Ọzọ Uruagwụ hulata ala, metụchaa isi Ọnwụha ahụ aka, ọ na-atakwa ikikere eze ọ na-ata. Ọzọ Uruagwụ were ọfọ ya gaa n'obi ya nọdụ ala were na-eche ndị okenye ga-ezukọ na nke ya n'oge mgbede. Tupu mgbede oge ahụ ndị okenye ga-eji bịa na-erute nso, ụda ikikere eze ahụ daa mmiri. Ọ dịghịzi onye nụrụ maka ya. Oge ndị okenye bịachara, ha kelee Ọzọ Uruagwụ wee tuo ya ***Akajiọfọ*** n'otu n'otu. Ka Ọzọ Uruagwụ kọchaara ha ihe isi Ọnwụha mere n'oge ehihie, ha sị ya gbachi nkịtị n'ihi na ọ bụ mgbe ha mechara ya ihe ha ga-eme ya ka ha ga-eji mara ma ọ ga-enwe ọnụ okwu ọzọ.

Ha kpokatara akịrịka nnukwu, mụnye ya ọkụ, buru isi Ọnwụha ahụ hụchaa ya n'ime ọkụ ahụ. Ka ha hụchara ya n'ọkụ, ha kpụkpuo ya, were ụbụrụ ya yọfuo n'ọhịa dị nso ebe ahụ n'ihi na ha kwenyere na ọrịa ga-adị na ya

maọbụ na ihe na-egbu mmadụ ga-adị n'ime ya. Ha berichaa mpaghara isi ya ndị ọzọ wụnye n'ọkụ were ha mee ezigbo ngwọngwọ. Ha were okpokoro isi ya ọ bụ naanị eze ya dị na ya ga dowekwa n'okwu arụsị Ọzọ Uruagwụ maka ncheta. Ka ha kechara ngwọngwọ ahụ, richaa, ha kelee Ọzọ Uruagwụ, onye ọbụla were mkpọ ya lawa na be ya n'ihi na nkịta riri ụtara, rie ji, were nọsie ike ebe ọ nọ, chọziri naanị ihe dị ka ube ụtarị abụọ.

## Isi Nke Asaa

# IHE DIKE HỤRỤ N’ỌGBỌ ỌGỤ

“Ọ bụrụ na anyị tụkata anya ha, ha alọtaghị taa, n’ụzọ ụtụtụ echi ezie m Ọjịgwe ozi ọ kụọrọ ndị obodo ekwe ka ha gbazuo n’ama Alaukwu. Ha bịazuchaa, anyị esi ebe ahụ họpụta ndị dimkpa ga-achọrọ ha gaa maka o doro m anya nke ọma na ọ bụrụ na ngụga anaghị arịa ọrịa, o nweghị ihe ọ ga-anọ n’elu uko ebe ọkụ ga na-acha ya nke ọma, eme. Ụdịrị ije a ha nọzi ugbua atọghị nkịtị n’ihi na ya bụ ụra na-achọzi ikwe izu. Ọ bụrụ na a gbachi ya nkịtị, ọ ghọrọ ọnwụ. Ha anọruola mgbe ndị nwe ha na ndị zijere ha ozi ga-eji chọrọ ha gawa ebe e zijere ha n’ihi na ọ na-abụ a tụọ anya dike gawara ihe, a hụghị ya, a juọ ase ya. N’ihi na isi dike ekwesịghị ka ọ tọ na mba. Ugbua, ndị be anyị niile ọ dịghịzi onye bara na be ya zuo ike, anya ha niile tọrọ n’ezi n’ihi na ha na-atụ anya nlọta ndị a maka ọ dịghị mgbe obi ga-eru nwaanyị nwa ya rịrị elu, ala, tutu nwa ya esikwa n’elu ahụ ọ rịgooro rịtuo n’ala. Ebe niile dara jii na be

anyị ugbua n'ihi na ọ dịbeghị onye maara ihe ọbụla banyere ndị a gara mba. Ụdịrị ọnodụ a abụghị ihe anyị ga-akụ naanị aka nghọ were na-ele n'anya. Ọ bụrụ na ha abataghị taa, anyị amara na okwukwe n'aka agafeela nku aka ma matakwa na ọ bụ ihe mere mwamba o jiri bee nwịị. Ụzọ ụtụtụ echi, anyị ahọpụta ndị kara aka ga-achọrọ ha gawa maka e mewe mgbe mgbe ọkwụrụ akarụọ akị."

Ọ bụ ihe ndị a ka Eze Ụzọemezie nọ na-agwa Alagbaọsọ na ụfọdụ ndị okenye ọzọ bịara n'obi ya ịjụ ya ma ndị ha zigara Dagburu ma ha abatala, mgbe Nzeka, Ọnwụajụase, Ọnwụka, Ikebụọnwụ na Ọgụagbaka wụchiri n'obi Eze Ụzọemezie. Tupu ha azọbata ụkwụ n'Alaukwu chi ejimiela nke ọma, mana ọtụtụ ndị be ha ka mụcha anya ọ kachasị ndị nwunye ha na ụmụ ha, were na-atụ anya ma ha nwere ike ịlọta ụbọchị ahụ. Ka ha batara n'obi Eze Ụzọemezie, ụzụ tụrụ n'elu, tụo n'ala, ndị mmadụ jupụtara ebe ahụ ji obi ụtọ na-ekele ha nnọọ, na-ekwe ha n'aka n'ike n'ike, na-etu ha aha n'otu ha siri gachaa ihe

ha gara ma werekwa isi ha lọta. Mana mgbe ha na-enye ha ekele niile ahụ ka ha ji anya were na-achọ Ọnwụha Ọgụdiru ebe ọ nọ. Ha lee anya ya, ha ahụghị ya. Ha gbachikwa nkịtị na-ekelekwa ndị si ebe e ziri ha were lọta 'nnọọ' n'ihi na a na-eburu ụzọ kelechaa dike gara ọgụ tupu a jụọ ya ihe o jiri lọta.

Nwantakịrị oge, o wusaala n'obodo Alaukwu niile na Nzeka na ndị ya na ha kpọ Ọnwụha Ọgụdiru gawa Dagburu alọtala mana Ọnwụha esoghị ha. Mkpọtụ aṅụrị jupụtara ebe niile n'obodo ha ka ha nụrụ na ndị ha na-atụ anya ha alọghachitela n'obodo ha. Onye nụ ya, ọ gbara gawa ka ọ mara ma ọ bụ eziokwu na ndị ha ji eje mba alọtala. Nwantakịrị oge, ndị mmadụ, ma ụmụnwoke, ma ụmunwaanyị, jupụta na mbaraezi Eze Ụzọemezie. Onye ọbụla na-esi ọnwụ na-achọ otu ọ ga-esi were anya ya abụọ hụ ha n'abalị ahụ, ka ọ ga-abụ ibe ya kwuwe na ha hụrụ ha ka o were nwee ike soro ha tinye ọnụ n'okwu otu ha dị mgbe ha lọtara. Ndị mmadụ jupụtara na mbaraezi Eze Ụzọemezie n'abalị

ahụ were na-enwe obi ụtọ na ndị ha ji eme ọnụ abatala. Ha ghewachara ntị ha oghe were na-eche ka ha mara ma ha ga-anụ otu Nzeka ha siri gaa ije ha ahụ.

Eze Ụzọemezie mechara si n'oche ya kulie were gwa ndị ọha obodo ya na ọ ga-adị mma ka onye ọbụla laghachi na be ya ga rahụ ụra abalị, ụzọ ụtụtụ echi ka mmadụ niile zukọọ n'ama Alaukwu ka ha were ntị ha, site n'olu Nzeka na ndị ya na ha sooro gaa ije ahụ, nụrụ otu ha siri jee. Na ọ ga-amagbu onwe ya na mma, ka ha hapụ inye ha nsogbu n'abalị ahụ, ka ha larụgodu n'ezinaụlọ ha ga zuo ike ebe ha si, ma hụkwa ndị ha hapụrụ kemgbe ha pụrụ. Ụzọ ụtụtụ echi ha niile ga-apụta were ọnụ ha kọọrọ ndị obodo ha ihe ha jetara n'ozi e ziri ha. Ozigbo Eze Ụzọemezie kwuchara ihe a, onye ọbụla kulie lawa were na-eche ka chi fo ka ha gaa n'ama Alaukwu nye ntị nke ọ na-eri.

Oge ndị mmadụ lachara, ndị okenye nọsiri ike n'oche ha were na-eche ka Nzeka ha

tụnye ha na Eze Ụzọemezie nwantakịrị azụ otu ha siri jee ya bụ ije. Eze Ụzọemezie gwara Nzeka ka o were nwayọọ kọwaara ha otu ha na Ọnwụha siri gaa n'agbara Dagburu n'ihi na obi erubeghị ha ala. Nzeka kwachaa akpịrị ya, were sị ha, "Ụmụnne m na ụmụnna m, soronụ anyị kelewe Chukwu n'ihi na e wepụ Chineke bi n'eluigwe, unu agaghịkwa ahụ anyị ọzọ. Naanị na ntị ka unu ga-anụ na anyị anwụọla. Kama enwere m obi ụtọ pụrụ iche na aka anyị niile gara ya bụ ije dịcha ọcha n'ihi na ọ bụ onye bu ka ọ na-anyị. Ọ bụrụ na ọ bụ atụmatụ ọjọọ ka anyị tụrụ banyere Ọnwụha Ọgụdiru, isi anyị ise aghaghị ịtọ na mba n'ije anyị ahụ. Kama Ọbasị bi n'elu maara na ihe anyị na-achọ bụ ka ala anyị dị mma. O nweghị onye ọbụla anyị na-emegide n'ihi na Alaukwu bụ ala na-akwụwa aka ọtọ n'ihe ọbụla ha na-eme. Tupu m daruo ala n'okwu m, aga m ekele ajaala Alaukwu, nna nna anyị ha, Isiogwugwu, Ngele, Umemma na Udoala, otu ha siri soro anyị gaa ije a ma hụkwa na ọkọ ọbụla akọghị anyị n'ahụ, anyị were jechaa ya were ndụ

lọtakwa. Udo dịkwara ha! Unu lee anya, unu ga-ahụ na Ọnwụha Ọgụdiru anyị kpọọrọ gaa n'agbara Dagburu esoghịzi anyị were lọta. Ọ bụ gịnị mekwaranụ? Anyị na ya yịirị bata na nke Ọzọ Ụruagwụ bụ Eze ndị Dagburu na mgbede anyasị n'udo na ọṅụ na-enweghị nsogbu ọbụla. Ọzọ Uruagwụ nabatakwara anyị nke ọma ka ọ hụrụ na anyị bụ ndị be Eze Ụzọemezie. O nyere anyị ọjị, anyị tachaa, o bupụtakwara anyị mmanya anyị ṅụkatara ma ṅụfọ. Ndị nwunye ya butekwara anyị nri, anyị rifọ ya erifọ.

Onye ọbụla na-enwe obi ụtọ ma Ọnwụha, ma anyị onwe anyị n'obi Ọzọ Uruagwụ. Anyị na Ọnwụha Ọgụdiru nọkwa na-akparịta nkata, na-ama njakịrị dị iche iche. Ọ dịghịzi onye a maara bụ onye, anyị niile bụrụzịa otu. Mana, anyị richara nri, anyị na Ọzọ Uruagwụ bidokwara ṅụwakwa mmanya ahụ o bupụtaara anyị. E mechaa mụ were obejiri m na egbe m dowe n'oche m nọ, were kulie gakwuru Ọzọ Uruagwụ ka mụ jụta ya usoro e ji agakwu agbara. Ọnwụajụase na ndị ọzọ

nọkwa na-aṅụ mmanya, ha na Ọnwụha. Oge mụ na Ọzọ Uruagwụ na-akparịta nkata ka ha na Ọnwụha na-akparịtakwa nkata nke ha, na-ama njakịrị, na achị ọchị. Nwantakịrị oge, Ọnwụha si n'oche ọ nọ malie mịrị obejiri ahụ mụ dowere n'oche were ya chọọ igbu Ọnwụajụase nọ ya n'akụkụ. Ọnwụajụase mapụ rie ọsọ, ndị ọzọ sochie ya azụ. Ọnwụha bido bewe akwa wee were obejiri ahụ makwute mụ na Ọzọ Uruagwụ ka o bere anyị isi tụpụ. Mgbe ahụ ka Ọzọ Uruagwụ ji were ọfọ ya gosi ya na dike na-aka ibe ya. Ọzọ Uruagwụ mechaa gbabatakwuo n'ime ebe ahụ mgbe ọ chọpụtara na Ọnwụha chọrọ igbu ya n'eziokwu. Ozigbo, Ọnwụha chụrụ anyị bịa ka o gbuo anyị n'ụlọ ebe ahụ anyị gbabara, Ọzọ Uruagwụ were tiere ndị ọ na-achị mkpu ka ha bịa nyere ya aka gbuo onye chọrọ igbu ya. Ndị Dagburu nuputa n'igwe chọgharịwa ya, mechaa jide Ọnwụha n'abalị ahụ gbuo ya, gbaa ya akpụkpọ, sie anụ ya risaa. Ọ bụ ka chi foro ka mụ na Ọnwụajụase, Ikebụọnwụ, Ọnwụka na Ọgụagbaka jekọkwara na mbaraezi Ọzọ Uruagwụ mgbe

ha na-achọgharị m ka ha mara ma m nọzịkwa ndụ. Ka ndị Dagburu richara anụ Ọnwụha ma mechaa ihe niile ha mere, anyị kelee Ọzọ Uruagwụ were lọtawa. Ọ bụ otu a ka anyị siri jee. Ndewonụ!!"

Mgbe Nzeka na-akọrọ ha ihe ndị ahụ niile merenụ, Eze Ụzọemezie na ndị nọ n'obi ya ahụ dụnyechara aka n'agba were na-ele ya ka a ga-asị na ọ bụ ifo ka ọ na-efo mana ọ bụ ihe mere eme. Eze Ụzọemezie si n'oche eze ya kulie ga kwee ha n'aka n'otu n'otu. O were sị onye ọbụla nọ ebe ahụ na ihe ahụ merenụ gosipụtara na Ọnwụha Ọgụdiru so Nwọhịa na Okechi were gbuo Ọhahụrụ maka na ọ bụrụ na aka ya dị ọcha dịka o siri na-agọ, ọ gaara enweta ndidi soro ha gaa n'agbara. Kama onye mmehie na-agba ọsọ mgbe o nweghị ihe na-achụ ya. Maka ọ marala na ọnwụ ga-egbu ya ma ọ bụrụ na agbara kọwapụta na aka ya dị n'ọnwụ Ọhahụrụ. Ọ bụ ya kpatara o jiri bido gboo chọwa onye ga-eso ya were nwụọ. Ọ gwara Nzeka na naanị nsogbu ọzọ ha ga-enye ha bụ na ha ga-

agba mbọ pụta n'ụtụtụ echi bịa kọwaara ndị Alaukwu otu ha siri were bụrụ isi kara aka jere ọgụ lọta, ka ndị Alaukwu ghọta ihe merenụ ma bụrụkwa nke ga-eme ka obi ruo ha ala.

Ihe ahụ Nzeka kọrọ, enyeghị ndị ọzọ nọ n'obi Eze Ụzọemezie ọnụ okwu. Mana onye ọzọ kwuru okwu ebe ahụ bụ maazị Alagbaọsọ. O kuliri kwee ha n'aka n'otu n'otu were tuo ha aha ha na-aza n'otu n'otu n'ihi na ọ bụ nke onye na-eri ka ọ na-anara. Ọ sịrị ha na ọ bụ otu ahụ ha siri gaa ije ahụ e dunyere ha kpatara o ji abụ ihe ike dapụta, a chọwa dike maka ọ bụ a chọwa ijide oke ehi a chọwa oke mmadụ. O kelere ha nke ọma otu ha siri jechaa Dagburu ma were ndụ ha lọta. O jikwa ohere ahụ gwa ndị niile nọ n'obi ahụ ka ha gbaa mbọ hụ na ha sokwa ndị obodo zukọọ n'ama Alaukwu n'ụtụtụ, n'agbanyeghị na ha aṅụchaala ihe merenụ"

Tupu o mechie okwu ya, ọ kpọrọ Nzeka aha pụrụ iche ma tuo ya *Ọhụọkaa* nke mbụ ndị

Alaukwu, were kwe ya n'aka ọzọ, sị ya na obodo ọbụla onye dị ka ya adịghị, obodo ahụ ezughị oke. Ọ sị ya na otu o siri duru ndị ọzọ gaa Dagburu ma durukwa ha lọghachita akọwarala ha n'eziokwu na onye a na-akpọ nwere ihe ọ na-eme. Ka Alagbaọsọ kwuchara okwu, ndị ọzọ bilitere nyewe ha niile ekele otu ha siri were obi ha jeere obodo ozi. Ha niile kelee Eze Ụzọemezie gbasaa ma lakwuwe ezinaụlọ ha n'otu n'otu maka nwata rie ihe ọ na-amụrụ anya, ụra eburu ya.

Tupu ha alaruo n'ụlọ ha n'abalị ahụ, nnukwu asịrị dị egwu na-arịzị ibe ya elu n'Alaukwu niile banyere Ọnwụha Ọgụdiru na-esoghị Nzeka na ndị otu ya lọghachite. Ọtụtụ na-ekwu na ha putara n'ụzọ gbuo ya. Ụfọdụ na-ekwu na ọ hapụrụ ha tinye isi n'ọhịa mgbe ha na-alọta, ha chụwa ya mana ha enwetaghị ya. Mana asịrị nke kacha ibe ya arị elu bụ na ọ bụ orire ka ha gara refuo ya ebe mmadụ agaghị ama. Kama ọtụtụ ndị nụrụ asịrị ahụ, na-asị na ọ bụ n'ụtụtụ echi ka ihe d wọrọ ogori ga-azụ n'ahịa.

Ka chi foro, ndị Alaukwu jupụtara n’ama ha were na-eche ka ha si n’ọnụ ndị gara ije mara nke ekwe na-akụ maka agwa na-akacha mma ma eke tụọ ya. Oge Eze Ụzọemezie hụrụ na ọgbọ ejula, ọ kpọlite Maazị Nzeka ka o were ọnụ ya kọọrọ ọha obodo otu ha siri gaa ozi e ziri ha. Maazị Nzeka kulie, kelee ndị be ha, were bido n’isi kọọrọ ha otu ha siri jee, ihe ha hụrụ n’ije ha gara na Dagburu, ihe Ọnwụha Ọgụdiru mere na ihe mere Ọnwụha Ọgụdiru na otu ha siri mechaa were ndụ ha lọta. Ọ gwara ha ka ha soro ha kelewe Chukwu kere ha otu ya bụ ije esighị rie isi ha. Mgbe Maazị Nzeka kọchaara ha ihe a nọdụ ala, ndị Alaukwu nọ ebe ahụ nọ na-adụ naanị n’ubu n’ihi na ihe ha nụrụ dị ha ka ọ bụ ihe mere na nro, mana ọ bụ ihe mere eme. Naanị n’aka ka onye ọbụla n’ime ha na-agba. Onye lee ibe ya, ibe ya elee ya. Onye nọkata nọkata, ọ dụọ n’ubu, saara onye nọ ya nso aka sị ya na obi ọjọọ egbuola ụfọdụ mmadụ Chukwu kere.

Ka Eze Ụzọemezie na Nzeka tọghechaara ha ngwugwu ahụ ha si na Dagburu welata, o wee sị ndị be ha, “Ugbua, o doola ewu na ọkụkọ nọ na be anyị a bụ Alaukwu anya na ọ bụ chi na-efo, ihe ọjọọ a na-atụ ime na-amụta nwa. Ụdịrị agwa ahụ Nwọhịa, Okechi na Ọnwụha kpara agbagherela anyị ka ajụ na ndị ihe ọjọọ na-eto afọ, ndị liri obi n’ala jupụtara n’etiti anyị ugbua. Ọ bụ eziokwu na onye ọbụla n’ime anyị na-eti mkpu, na-agba n’aka, na-ekwu na Nwọhịa, Okechi na Ọnwụha merụrụ ala, kama ya atụkwala unu n’anya na ọ bụrụ na a kpachaghị anya na a ga-esi n’etiti anyị were nweta ndị ga-aka ha mee ihe ha mere. Mana ihe mụ chọrọ ka onye ọbụla n’ime anyị ghọta bụ na onye ọbụla na-eri ji n’abalị bụ chi ya ka ọ na-aja eze. Ihe ọbụla anyị na-eme, anyị ga-aghọta nke ọma na ọ bụ obodo anyị a bụ Alaukwu ka anyị na-ete unyi. Nna nna anyị ha ebegbuola onwe ha n’akwa maka aha ha anyị na-emetọ. Matakwanụ na ihe ọbụla anyị metara bụ onwe anyị ka anyị na-emetara ya. Werenụ ahịa  Afọ anyị e ji ama atụ wee mara na mụ

akpụghị mmiri n’ọnụ were na-ekwu. Na ọ bụ ihe onye metara ka e ji akwụ ya ụgwọ. Kemgbe ahụ Nwọhịa, Okechi na Ọnwụha gbuchara Ọhahụrụ, ndị mmadụ anaghịzi ekwe abịa ahịa na be anyị ụbọchị Afọ n’ihi na ha na-asị na ọhịa ogwu mara ọkụkọ, onye kachie ntị baa na ya e si ebe ahụ bupụta ozu ya. Ị gazịa n’ahịa anyị ụbọchị Afọ, ihere emegbuo gị. Ndị be anyị anaghịzi erepụ ihe ha wetara n’ubi ha naanị ma ha buuru ya gaa n’ahịa obodo ndị ọzọ dị ha nso. Ugbua e werela ihe ahụ Nwọhịa, Okechi na Ọnwụa mere wee mara anyị dị ka ndị ji igbu mmadụ eme nri ehihie. Ebe ọbụla ị pụtara kọwaa na ị bụ onye Alaukwu, ndị gị na ha nọ enyowe gị enyo dị ka onye na-egbu isi. Bikonụ ụmụnne m, ihe mụ na-arịọ unu bụ ka onye ọbụla n’ime anyị hụrụ agadi nwaanyị ebe ọ na-eri akpala ọkụkọ gbaa mbọ napụ ya akpala ọkụkọ ahụ maka ọ nwaa anwa bute ụkwara, o zuo ọha niile ọnụ. Onye ọbụla n’ime anyị ga-etinye aka ka anyị hụ na e kpochapụrụ ihe ọjọọ rụrụ ụlọ biri n’Alaukwu ugbua. Bido taa gawa n’ihu, onye ọbụla anyị nwetara maọbụ

nata ozi na o gburu mmadụ, maọbụ onye be anyị ma ọ bụ onye mba ọzọ, naanị Chineke bi n’eluigwe ga-akọwa nke ọma ihe anyị nwere ike ime onye ahụ. Igbu mmadụ anyị na-ekwu ebe a abụghị naanị maka onye ji mma maọbụ egbe gbuo mmadụ ibe ya. Ọ gbasakwuru ndị ji ọgwụ edula mmadụ ibe ha mmụọ maọbụ were ọgwụ mee onye Chukwu kere otu o siri kee ha, ***‘ọ dị ndụ ọnwụ ka mma.’*** Ndị be anyị, naanị ihe anyị chọrọ bụ ka ala dị mma. Onye mara asụ, ọ sụọ n’ikwe. Onye amaghị asụ, ọ sụo n’ala.”

Oge Eze Ụzọemezie kwuchara okwu, ndị Alaukwu na-ekele ya na-asị ya na Chukwu ga-edowe ya ogologo ndụ ka ọ chịrị ha na-aga n’ihi na ọ bụ ihe ahụ o kwuru ka ha chọrọ na be ha ugbua. Na Chineke ga-enye ya akọ na uche ọ ga-eji chịrị ha na-aga, udo ga-adịrị ya n’ihi na ọ bụ onye ọbụla chọrọ udo ka udo ga-abịara.

Ha kwuru ma kwekọrịtakwa na ha so ya n’azụ n’ihe ọbụla ọ na-eme ugbua, ebe ha

chọpụtarala na ọ bụ naanị ihe ga-adịrị onye ihu na onye azụ mma ka ọ na-achọ. Na o doola ha anya na ọ dịghị oge ọ ga-akpọnye ha isi n'ọhịa. Onye ọzọ kwuru okwu tupu ha gbasaa bụ Maazị Ọhaekwe. Ọ sịrị ha,

"Alaukwu kwenụ o!"
"Ya a a !"
"Mụọnụ o!!"
"Ya a a!"
"Zụọnụ o !!!
"Ya a a!!
"Ndị be anyị kwezuonụ o o!!!!
"Ya a a a!!!"

"Ikwikwii ghụchara ahụ were jụọ ụmụ ya kedụ otu ya dị, ụmụ ya were sị ya na ọ bụ ugbua ka njọ ya bidoro rịwa ibe ya elu. Ụmụnne m, ụkpana na-erela n'ọkụ ọ sị na ọ na-aha mmanụ, mana ọ maghị na ọ bụ mmụọ ka ọ na-ala. O nwere ụdịrị ihe ọ na-abụ ọ na-eme, ndị mmadụ a na-ajụ ma okenye ọ nọkwa n'ụlọ mgbe ụmụaka pịchara akụ na-

agba udele chee na udele bụ anụ oriri. O doro m anya nke ọma na ihe ndị ahụ Eze Ụzọemezie kwuru piobara onye ọbụla nọ ebe a ntị. Ụmụnne m, anyammiri juru m anya n'ihi na ihe a ndị be anyị na-eme egbuola obodo anyị a, tọgbọ. Anyị bụ ndị okenye chara isi awọ anọrọla ala were anya okenye ji ahụ ihe danyere na mmiri wee mara na ndị arụrụala nọ n'etiti anyị emeela aha Alaukwu ọ na-esizi isi ka nkapị. Unu chọkwara ka anyị si na be anyị chefuo ihe ọjọọ a niile na-akapgharị ka ọ bụ ha nwe obodo?" Mmadụ niile nọ ebe ahụ were oke olu tie, "Anyị chọrọ, anyị chọrọ, n'ihi na a naghị ajụ oke ma ọ ga-erikwa azụ!!" Ihe ahụ ọ na-ekwu mere ka nnukwu egwu jide ha niile maka ọ dịghị onye maara ma ọ bụ ya ka ọ bụ ikwu ya maọbụ ibe ya ka agwa ọjọọ ndị omekome a ana-ekwu maka ha, ga-erutụ ọzọ ma ọ bụrụ na e jighị ugbua kwọwa ya bụ mmiri.

Ọhaekwe mechaa kwurukwa okwu ya gawa n'ihu, "Unu niile ewerela otu olu kwekọrịta n'ezie na unu chọrọ ịchụ ihe ọjọọ ọsọ ụkwụ

eru ala n'Alaukwu. Naanị ihe mụ chọrọ ka anyị na-eme bụ ka onye ọbụla hụrụ onye ọbụla n'ime anyị na-eme ihe ọjọọ, ya were ọsọ ga kọọrọ Eze Ụzọemezie maọbụ otu onye n'ime ndị ndụmọdụ ya. Ọ bụrụ na e mechaa chọputa na onye ahụ a na-ebo ebubo mere ihe a na-ebo ya n'ezie, Alaukwu niile ejikọọ aka ọnụ baara onye ahụ mmọnwụ anyasị. Naanị ọfọ mụ na-agọ bụ ka Chukwu ghara idowe onye ọbụla n'ime anyị hụrụ ihe ọjọọ wee were nkata kpuchie ya ka mmadụ ghara ịma, ndụ. Ekwuchaalanụ m ka ọ ha m n'ọnụ na otu o siri dị m n'obi maka a kụkata aka n'obi, e gosi ndị mmụọ ebe ndụ dị. Onye marakwa na ihe a e kwuru ebe a n'ụtụtụ adịghị ya mma, ọ pụta ugbua mee ka ọha na eze nọ ebe a mara." Ha niile tie na ọ dị ha mma, n'ihi na ọ dịghị onye ihe ọjọọ na-atọ ka nnu.

Ka Maazị Ọhaekwe kwuchara okwu nọdụ ala, Eze Ụzọemezie kelee ya, were jụọ ndị ọha obodo ma o nwee onye ọzọ nwere ihe ọ ga-atụnye n'okwu ahụ a kpụ n'ọnụ. Ha sị ya

mba n'ihi na ọ dịghịzi ihe ha maara ha ga-ekwu ọzọ ga-aka nke e kwuru ekwu, mma maka okwu ọma adịghị mma na-akwụ ọtọ. Eze Ụzọemezie kelee ha, were sị ha na ebe ọ bụ na ha kwetara na okwu ga-adị otu e siri kwuo ya, na onye ọbụla nweziri ike ịlawa na be ya chebara ihe ndị ahụ e kwuru echiche ime ma wee ha mere ihe. Oge Eze Ụzọemezie kwuchara ihe a, onye ọbụla kulie chọwa ụzọ be ya. Ọtụtụ gakwara naa Nzeka, Ọnwụajụase, Ikebụọnwụ, Ọnwụka na Ọgụagbaka, n'aka n'otu n'otu n'ihi otu ha siri gaa ije ka dimkpa were lọta ka dike. Ha sooro ibe ha were na-ala na be ha mana otu ndị mmadụ si were na-ekele ha ekweghịzi ha laruo na be ha n'oge.

Ụlọ Nwọhịa, Okechi na Ọnwụha mechara dakpọchaa n'otu n'otu, ahịhịa na ero puchichaa ha. Ndị nwunye Okechi na Ọnwụha kpọọrọ ụmụ ha gbalachaa na be nna ha maka ọ dịghi onye ga-ahụ ebe ihe ọjọọ tụrụ ụlọ biri ọ na-agụ ya agụụ n'obi ka ha abụọ bụrụ agbataobi. O nweghịkwa onye na-

ekwe atụ ọkpa na mbaraezi ha na kwa gburugburu mbaraezi ha. Naanị aka ka a na-arụrụ onye ọbụla chọrọ ịma ebe be ha dịgacha. Ewu ha na ọkụkọ ha gaa n'elu, ha gaa n'ala, ọ bụghị ihe ndị Alaukwu chọrọ ịma n'ihi na onye metara ihe arụ mana ọ merịaghị ya sị ụmụnna ya gbaara ya ọsọ.

## Isi Nke Asatọ
## NDỤ BỤRỤ AKWA OKỤKỌ ONYE IRO ETIWAA YA

Ndị Dagburu mechara were akpụkpọ Ọnwụha ahụ ha kosara na be Ọzọ Uruagwụ kwee ịgba. Ihe e ji mara ịgba ahụ bụ ***Ọdụike***. Naanị ndị na-agba ịgba ọdụike ahụ bụ ndị dimkpa mere ihe siri ike dị ka ndị gara ọgụ were isi mmadụ lọta, ndị gara mba kpaa ike lọta na ndụ, ndị gburu ndi buuru ọnwụ bịakwute ndị Dagburu, ndị memilara ndị ji nsogbu bata n'obodo Dagburu. Mgbe e ji ebupụta ịgba ọdụike ahụ bụ mgbe nnukwu mmadụ nwụrụ n'obodo, maọbụ mgbe ndị dimkpa Dagburu na-eme emume pụrụ iche. Tupu a malite kụwa ịgba ahụ ebe dike nwụrụ, a ga-ebu ụzọ gbuo okeọkpa chara acha, were ọbara ya gbasachaa na ya, ndị na-akụ ya ewere ozu ọkụkọ ahụ. Ọ bụ ha ga-esi ya, rie. Nwaanyị agaghị edetụ anụ ọkụkọ ahụ ọnụ ma e sichaa ya. A na-akụ ịgba Ọdụike, onye ọbụla ga-agba ya ga-ejirịrị mma n'aka were

na-agba ya iji were gosi na ọ bụ egwu dike. Ịgba ọdụike ahụ dị abụọ, nke nnukwu na nke obere. Ndị ahụ na-akụ ya na-agụkwara ndị dike ahụ na-agba ya egwu. Onye na-akụ nke obere na-ama mbem, na-ekwu okwu ụfọdụ e ji ama dike ma egwu na-aga n'ihu:

Onye ụjọ agbakwala ọdụike
Onye mere ihe ike bịa
Gbaara m egwu ike!

Ogbodu apụtakwala n'ọgbọ,
Dike bịa mere m ihe ebube,
Ọdụike bụ egwu ndị odogwu,
Biko ndị dike anyị ji eje mba,
Bịanụ gbaara m egwu ike!!

O ruola mgbe ndị ukwu
Anyị nwere ji agba egwu ukwu
N'ihi ya, onye ụjọ gbafụkwaa
Maka ntị dike na-asọ ajọ okwu!!!

Ị bụrụ dike nụ ọdụike

Mara na opi dike
Na-akpọ onye ike
Pụta n'ọgbọ
Ka a hụ dike
Ma mara dịke!!!!

N'ezie, o ruola
Mgbe dike na dike
Ji ama aka mma
Onye ụjọ nọrọkwa n'akụkụ
N'ihi na ndị nọ n'ọgbọ
Bụkwa ndị odogwu!!!!!

Onye ahụ na-akụ obere ịgba ọdụike ahụ na-eji ya agaghari agaghari n'ọgbọ. Ka ọ na-agaghari ka ọ na-akụ ya. Ọ na-akụ ya, ọ na-ama mbe ya ka ndị na-agba ya were chefuo na ihe e kere eke na-anwụ anwụ, Ndị na-agba agba, gbaa gbaa, ha atụlie mma ha elu ma ghọrọkwa ya, tụgharịa ozigbo were mma ha naa onwe ha n'aka, ma tụgharịkwaa ọzọ gbawakwa egwu ha. Egwu ịgba ọdụike bụ egwu ebube ndị dike na-agba.

Ọzọ Uruagwụ mecharawere igwe kụpụtachaa eze Ọnwụha ahụ dị n'okpokoro isi ya nke o dowere n'okwu arụsị ya, were nnukwu mkpa o nwere were fopụtakwuo eze ndị nke ekweghị mpụta. Ọzọ Uruagwụ chịrị eze Ọnwụha ahụ ọ mịpụtachara gakwuru otu onye ụzụ ndị Dagburu nwere. Onye ụzụ ahụ were mpịsịigwe gbapụchaara ya ha niile n'otu n'otu. Ọzọ Uruagwụ ziri ozi a zụtara ya ákà na òwó n'Orie Dagburu. O were eriri owu ahụ gakọta aka ahụ na eze Ọnwụha Ọgụdiru ọnụ zochie ma werezịa ya mere ọlaaka n'ihi na a naghị agba aka aza dike maka na ọ bụ a hụ eze, a hụ ngwa agha ya. O nwee mgbe ọbụla a na-akụ ịgba ọdụike maọbụ na-agba ikoro, o were ọlaaka ya ahụ o ji eze Ọnwụha were mee, gbanye n'aka nri na aka ekpe ya, were abụba ugo abụọ tunye n'okpu mmee mmee ọ ga-ekpu n'isi tupu ọ gawa ebe ahụ.

Ọ bata ozigbo, ọ chịlie aka ya abụọ elu, gbasaa ha ka onye ọbụla nọ ebe ahụ na-ahụ

ya. O werezịa anwansi na ngala dị ebube were na-aga ọgbọ okirikiri ma na-agbakwa ịgba ọdụike maọbụ ikoro. Ọ gbatụ nwantakịrị egwu, ndị dike e nwere n'obodo agbapụta, bịa naa ya aka. Ha nachcaa ya aka, o were ije ebube ebube ga nọdụ ala n'oche e doweere ya.

Igbo kwuru okwu sị na o nweghị obodo ihe na-ata akwụ adịghị. O teghị aka ndị Dagburu meminachara Ọnwụha Ọgụdiru, bekee bata na Dagburu. Ihe izizi ndị iro Ọzọ Uruagwụ jiri nabata ndị ọcha ahụ batara na be ha bụ ikpesara ha na Ọzọ Uruagwụ gburu mmadụ. O nweghị ebe e gburu aja azụ owere adịghị. Oge a kọchaara ndị bekee otu eze ndị Dagburu siri gbuo mmadụ, ndị ọcha anọ na otu onye okwupụta okwu aha ya bụ Ahịnze wee wụchie n'Orie Dagburu. Ha zipụ kọtụma ka ọ ga kpụta Ọzọ Uruagwụ. Kọtụma gaa na be Ọzọ Uruagwụ ga kpụta ya n'ihi na ọ naghị atụ egwu igbu onye ogologo maka ọ maara na ọ bụghị ya ga-egwu ili ya ma ọ nwụọ.

Mana tupu Ọzọ Uruagwụ esowe ya, ọ bara na be ya kwadochaa nke ọma, werekwa eze Ọnwụha ahụ o jiri mee mgbaaka gbanyekwa n'aka ya abụọ.

Oge kọtụma kpụurụ Ọzọ Uruagwụ bata n'Orie Dagburu ebe ndị ọcha mmadụ anọ ahụ na ọkọwa okwu ha nọ, ndị mmadụ gbakọjuru ebe ahụ niile ka ha mara ihe ndị bekee na eze ha ga-eje. Ha kpụrụ Ọzọ Uruagwụ kwụwa ya n'ihu ha. Ha buuru ụzọ jụo ya ajụjụ maka ihe a sị na o mere n'ihi na onye a ga-egbu egbu ga-azarịrị ọnụ ya. Ndị ọcha ahụ jụrụ Ọzọ Uruagwụ, "Maazị Uruagwụ, anyị natara ozi na i gburu mmadụ, were anụ ya mee mmemme pụrụ iche n'obi gị. Kedụ ihe kpatara i jiri gbuo mmadụ ibe gị?" Ka ndị ọcha jụchara Ọzọ Uruagwụ ajụjụ ahụ, o were kwee n'isi ma hulatakwa isi ya ala. Nkịta nọrọ n'echiche, ọ dị ka ọ nọ n'ụra. Ọ bụghị ụbọchị ahụ ka Ọzọ Uruagwụ bidoro hụwa ihe na-acha ụcha. O teela azụ na mmiri. Ọ bụ anya akaghị aka ka a na-akọrọ otu isi

ndịmmụọ na-adị mana ya bụ Ọzọ Uruagwụ ahụla ndịmmụọ wee mara otu isi ha na-adị.

Ọzọ Uruagwụ mechaa welite isi ya elu were zaa ndị ọcha ahụ na-ekpe ya ikpe sị ha, "Eee, egburu m mmadụ mana ọ bụ ihe kpatara agwọ jiri loo awọ. Mana, ka mụ jụọ unu nwantakịrị ajụjụ: Ọ bụrụ na mmadụ abịa be unu were mma chọọ ka o gbuo unu, unu ga-agbachị ya nkịtị ka o mee uche ya; ka unu ga-azọwa isi onwe unu?" Oge Ọzọ Uruagwụ jụchara ha ajụjụ a, Ahịnze kọwaara ha ihe ahụ ọ jụrụ ha na bekee. Ndị ọcha ahụ were fee isi ha kpaka kpaka were sị mba na ha agaghị ahapụ onye bịara igbu ha ka o gbuo ha, kama na ha ga-achọwa ụzọ ha ga-esi gbapụta isi onwe ha. Ọ bụrụgodu na ha hụ ụzọ ha ga-esi gbuo onye ahụ, ha egbuo ya ebe ha maara na o nweta ha o dulaa ha mmụọ. Ahịnze kọwaara Ọzọ Uruagwụ ihe ha zara ya. Ọzọ Uruagwụ kwee n'isi n'ihi na okwu ekwuola onwe ya. O were sị ndị ọcha ahụ, "Ihe unu zara m juru m afọ n'ihi na

nwammụọ na-eje ọgụ igbu mmadụ pụtara n'ụzọ were hụ ozu nwụrụ anwụ, o tie chaị na ije eberela ya nkenke. Ihe kpatara mụ jiri gbuo nwoke ahụ bụ maka na ọ bịara be m were mma chọọ ibepụ m isi, m were sị kama ụsụ ga-atagbu m, m nyata ya n'eso were anụ ya mee ngwọngwọ. Agaghị m ahapụ ya ka o felaga maka ọ bụrụ na ọ nwaa anwa felaga, ọ bịa ọzọ, o were m sụọ ọsụ ụkpana." Ọzọ Uruagwụ malitere n'isi wee kọọrọ ndị bekee ahụ otu Ọnwụha Ọgụdiru siri chọọ ikpochapụ ya na ndị obodo ya nke kpatara ha jiri mee ya ihe ha mere ya. Maka na anụ hụrụ ha were puo mpi ka ha jizi mpi ya were ṅụọ mmanya. Na mmechi okwu ya, Ọzọ Uruagwụ sịrị ndị ọcha, "Osisi ọbụla hụrụ m were tewe nkwe, ọ bụghị naanị na mụ ga-arị ya elu ma ọ daruo ala, kama aga m akparakwa ya nkụ." Ozigbo o kwuchara ihe ndị a, o gosi ndị ọcha anọ ahụ eze nwoke ahụ ebe ọ gba ha n'aka ya abụọ. Mgbe Ọzọ Uruagwụ na-akọwa ihe ndị ahụ niile, Ahinze

nọrọ ọrụ ịtapịara ndị ọcha ahụ ihe niile o kwuru na bekee.

Mgbe ndị ọcha mmadụ anọ ahụ nụchara olu Ọzọ Uruagwụ, ha sị ya na aka ya dị ọcha, na ọ dịghị ihe ọbụla o mere n’ihi na ọ bụ isi onwe ya ka ọ zọrọ. Ha were isi anwụrụ asaa nye ya iji were tuo ya dike maka otu o siri gbalahu ọnwụ bịara igbu ya na ndị obodo ya. Ndị ọcha ahụ gwara ya ka o were isi ụtaba asaa ahụ lawa n’ihi na ọ bụ dike maka na ọ bụghị mmadụ niile ga-eje ọgụ na be ndịmmụọ ma werekwa isi ha lọta. Onye nkọwa okwu ha bụ Ahịnze were otu obere mkpọ nwere okwuchi nye ya ka o were na-etinye ụtaba ya ahụ ma o gwechaa ya n’ihi na ihe o mere bụ ihe dike ga-eme. Ha sị Ọzọ Uruagwụ lawa na ikpe amaghị ya. Na ọ dịghị ihe ọbụla o mere n’ihi na o ji ọfọ.

Ọzọ Uruagwụ lọta na be ya ga kpụpụta otu ewu gbuoro ndị be ya were sị ha nwewe aṅụrị n’ihi na o meriela ndị iro ya. Na ndị iro

ya jupụtara n'obodo ha bụ Dagburu kpara nkata otu ha ga-esi dulaa ya, wee were ya kwanye n'aka ndị bekee ka ha meminaa ya, mana ugbua o kpuola atụmatụ ha ahụ niile ihu n'ala. Onye amaghị onye karịrị ya bụ chi ya ka ọ na-enye mkparị maka na mbe hụrụ enyi were wakwawa ọgọdọ bụ ebe o siri bịa ụwa na-akpọ ya oku n'ike n'ike.

Ọzọ Uruagwụ mechara kwadoo onwe ya nke ọma, were eze Ọnwụha ahụ gbanye n'aka ya abụọ ahụ, pụta n'obi ya nọdụ ala n'oche eze ya maka onye gara ọgụ na be ndịmmụọ merie ha, anaghị atụ ọgụ ndị mmadụ, egwu. Ozigbo ndị Dagburu nụrụ na ndị bekee kpụụrụ Ọzọ Uruagwụ ahapụla ya, ha na-enubata n'igwe n'obi ya na-ajụ ya otu ya na ha siri jee. Ọzọ Uruagwụ na-akọrọ ha otu o siri gosi ndị iro ya gwara ndị bekee batara na be ha na o gburu mmadụ, na ọ bụ ọfọ ka idide ji awa ala. Na oji ọfọ ga-alarịrị!

Ebe ọbụla Ọzọ Uruagwụ na-agazị, ọ gbara eze Ọnwụha ahụ n'aka ya gawa n'ihi na o kpegbuola ndịmmụọ wee were ọkụ ha na-erizi nri. Ọzọ Uruagwụ gara n'ihu na-agba eze Ọnwụha ahụ n'aka tutu ọ nwụkwaa n'ihi na onye dị ka ya gwuru mmiri ukwu a na-atụ egwu, gwuo mmiri nta, ọ dịghị nke riri ya, ọ bụghị ite ofe agadi nwaanyị ga-eri ya.

## Isi Nke Itoolu
## IHE E MERE ATỤRỤ DỊ EBULU IWE

Ndị Igbo kwuru okwu sị na ọ bụrụ na okenye kechaa ekpe o nwụghị, ihere emegbuo ya. Oge ndị Ụmụnka meminachara Nwọhịa na Okechi, Udenkwọ nwanne Ọhahụrụ jekwuuru Nze Iyiegbu were sị ya na ọ bụ eziokwu na e ji mmadụ abụọ ahụ ha dulara mmụọ were tie ha aka n'obi maka Ọhahụrụ ha gburu kama obi adịbeghị ya mma. Na ọ ga-ahụrịrị na o boro ndị Alaukwu àpà ala ala. Nze Iyiegbu gwa ya ka o were nwayọọ chefuwa ihe ahụ merenụ n'ihi na ọ gaala. Ka ọ hapụ ime ihe ọzọ n'ihi na ọ bụ ka a hụtachaa ka mgbọ ji atụ enwe n'isi, maka onye chọrọ ịghọtacha ihe ụkpaka ya mịrị na-eji isi ya ekele ala. Udenkwọ tụtụrụ ntutu isi ya taa were sị Nze Iyiegbu na kama ọ gaghị emezu ihe bụ uche ya, kama o mee ya mmaji kwuru mmaji.

Udenkwọ laghachi na be ya were bido mewe uche ya ahụ iji were bọrọ ụgwọ ihe e mere

nwanne ya nwoke bụ Ọhahụrụ. Udenkwọ malitere gawa mba dị iche iche ịgwọta ọgwụ ga-eme ka ndị mmadụ kwụsị ịga ahịa n'Afọ Alaukwu. O sughị ike n'ala ne be ya o mekwaa izu abụọ. Ọ gagharịkatara ego niile o nwere gwụ. O bido rewe ewu na ọkụkọ ya niile ya maka na ọ ṅụrụ iyi sị kama ihe o sinyere n'ọkụ agaghị eghe, kama nkụ ya gwụchaa. Ndị o jere gwọta ọgwụ na nke ha ruru oke dibịa asaa anwụrụ ọkụ na-apụcha n'isi. Nke gwọchaara ya ọgwụ, ọ gwa ya usoro ọ ga-eji soo ọgwụ nke ya ka o wee ree ire otu ọ chọrọ.

Ndị dibịa asaa ahụ bụ ndị e ji ama atụ ọgwụ na mba ha dịgasị iche iche. Ụfọdụ nyere ya ndị ọ ga-eli n'ala n'ahịa Afọ Alaukwu ahụ, na ndị ọ ga-elichi n'ụzọ ndị obodo ọzọ si abịa ahịa n'Alaukwu. Ụfọdụ n'ime ndị dibịa ahụ nyekwara ya ọgwụ ndị nke dị ka ntụ ọ ga-efesacha n'Afọ Alaukwu niile. Ha gwara ya na o mechaa ihe ahụ niile otu ha siri gwa ya, Afọ Alaukwu ga-aghọ ebe oke na ngwere na-

eme nzukọ. Udenkwọ ezughị ike tutu o mechaa ihe ahụ niile o kwere chi ya na nkwa na ọ ga-eme maka nwanne ya bụ Ọhahụrụ.

O ji ndeeri gaa n'Afọ Alaukwu ga lie ọgwụ ndị a gwara ya lie n'ala ma werekwa ndị nke ahụ dị ka ntụ fesachaa ebe ahụ niile, ikuku kuo kusaa ma busaa ha ebe niile. O mechaa were ndị nke a sị ya lichie n'ụzọ ga lichichaa ha n'ụzọ dị iche iche jikọtara ndị Alaukwu na obodo ndị ọzọ. Ọ na-abụ nwata mee ihe bụ uche ya, obi eruo ya ala. Udenkwọ mechara ihe ndị a were na-elezi anya ka ọ mara ihe nkịta na ọkpụkpụ ga-eje. Ọ na-abụ oke dibịa gwọchaa ọgwụ o dị ka ọ natara ndịmmụọ ikike. Ọgwụ ndị ahụ bidoro ozigbo rewe ire ka o sere okwu. O kwechaghị izu abụọ ndị mmadụ were anya ha hụwa ike ọgwụ ahụ na-akpa n'Afọ Alaukwu. Afọ ọbụla n'Alaukwu, na-adịzi ka ebe ụmụaka na-egwuri egwu ọnwa. O nweghịzi ndị na-esi obodo ọzọ abịa ahịa ebe ahụ. Ọ bụ naanị ndị Alaukwu na-ere ihe ebe ahụ na-azụkwa ya onwe ha. Bido

mgbe ahụ ruo taa, Afọ Alaukwu were dị ka ebe ọkụ gbara ịkpa.

Ogwu amaala ọkụkọ! Arụ esowela ndị metara ya!! N'ihi na mmehie ọbụla nwere ụgwọ ya!!!

## OKWU MMECHI

Naanị ihe a na-agwa onye ìsì bụ na mmanụ adịghị n'ofe, a naghị agwa ya na nnu adịghị n'ofe. Ụgwọ ọrụ onye mmehie bụ ọnwụ. Onye gburu ọchụ chee aka ghọrọ ọnwụ. A gbataghị ya n'ọsọ. N'ihi na mee elu, mee ala, ama akịdị ga-agbarịrị na nsị. Maka na ama ehi agbaghị n'izu, ọ gbaa n'ọnwa.

Onye ihe ọjọọ, i kwetala na mpụ ọbụla e mere n'uchichi na-ese n'elu n'ehihie n'ihi na ọkpa ọbụla na-aga warawara, anya na-ele warawara na-ahụ ya. Maka na ọ na-abụ anwụ kee a hụ ihe nte gburu.

Gị bụ onye omekome, mata nke ọma na aka ga-akpatarịrị gị n'ikpeazụ. Ọ bụrụ na aka mmadụ akpataghị gị, aka Chukwu akpara gị. Naanị ihe dị na ya bụ na mgbe ọbụla iko gị juru, ị racharatụ ụtụ ahụ ị na-enye ndị ọzọ.

Ọfọ m na arịrịọ m bụ ka ihe onye ọbụla metara kpụọ ya isi okpukporo. Onye ahụ

tachaa ahụhụ ya na ndụ, ọ nwụọ ọ malite tawakwa nke bụ ahụhụ. N'ihi na ọ bụ ihe onye tụrụ n'ahịa ka a na-azụtara ya. Maka nwata sị na nne ya agaghị arahụ ụra agaghịkwa arahụ ụra nke ya. N'ihi na ọrịa gburu ozu na-eso ozu ala n'ili. Oji ọbara aghụ ahụ ghọtakwa na ọnwụ kpe azụ. Ụdịrị ọnwụ ọ ga-abụ, ọ maghị. Ị nwee ntị, ị nụrụ!!!

## EDIDE MPỤTARA

| | | | |
|---|---|---|---|
| Asọmmiri, | 26 | - | Saliva |
| Ụtaba, | 9, 12 | - | Snuff |
| Anyammiri, | 20,28 | - | Tears |
| Nwamkpi, | 22 | - | He-goat |
| Oboaka, | 36 | - | Palm |
| Òkpòró, | 51 | - | Cobra |
| Ụta, | 48 | - | Arrow |
| Chakoo, | 72 | - | Empty |
| Ụmụodibo, | 94,98 | - | Servants |
| Ngụgụ, | 85 | - | Lungs |
| Ịda owu | 98 | - | Silence |
| Okpiri | 108 | - | Club |
| Akpụkpọ | 54 | - | Skin |
| Mgbịrịma afọ | | - | Intestine |
| Mkpa, | 144 | - | Scissors |
| Ụzụ, | 140 | - | Blacksmith |
| Aka, | 144 | - | Bead |
| Owu, | 121 | - | thread |
| Onye nkọwapụta okwu, | 145 | | Interpreter |
| Kọtụma, | 179 | - | Court |
| Messenger | | | |